**NATIONAL OPEN UNIVERSITY OF NIGERIA**

**SCHOOL OF ARTS AND SOCIAL SCIENCES**

**DEPARTMENT OF LANGUAGES**

**COURSE CODE: IGB 361**

**COURSE TITLE: INTRODUCTION TO IGBO DRAMA**

**IGB 361: INTRODUCTION TO IGBO DRAMA**

Odee Ihe ọmụmụ: Dkt. Ogechukwu Chukwuneke

Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ, Asụsụ Igbo na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka. (Dept. of Linguistics, Igbo and Other Nigerian Languages, University of Nigeria, Nsukka).

Onye Ọ̀dezi Ihe ọmụmụ: Prọfesọ H. S. Igboanụsị

Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Naịjirịa (Dept. of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Nigeria).

Onye Nchịkwa Ihe ọmụmụ: Prọfesọ H. S. Igboanụsị

Ngalaba Amụmamụ Sayensi Asụsụ na Asụsụ Afrịka, Mahadum Ibadan, Naịjirịa (Dept. of Linguistics and African Languages, University of Ibadan, Nigeria).

**National Open University of Nigeria**

National Open University of Nigeria
Headquarters
Plot 91, Cadastral Zone, University Village,
Nnamdi Azikiwe Expressway,
Jabi, Abuja.

National Open University
Headquarters
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island
Lagos

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

Published by
National Open University of Nigeria

Printed 2022
ISBN:

All Rights Reserved

**NDỊNA AKWỤKWỌ** **IHU**

Mkpọlite………………………………………..…………………………………………….
Mbunuche Izugbe ……………………….…………………………………..………….
Mbunuche Kpọm kwem…………………..…………………………………….…………….
Nkọwa Ihe Ọmụmụ……………………………….………………………….………………
Ngwa Ihe Ọmụmụ……………………………………….……………………………………..
Yunit Ihe Ọmụmụ………………..……………………………...………………………
Akwụkwọ Ọgụgụ na Nrụtụaka…………………………………………………………………
Nnwàle ……………………………………………………………………….……………
Ihe Omume…………………………………………...……………………………
Ule Enyemmaakị……………………………………………………………………….
Usoro Enyemmaakị…………………………………………………………………….
Ndịna Ihe Ọmụmụ…………………………...………………………………
Ka a ga-esi ritekarịcha Uru Ihe Ọmụmụ ………………………………………..
Ndị Nduzi na Nkuzi ……………………………………………………..……….
Nchịkọta……………………….………………………………………………….…………

**Mkpọlite**

IGB 361 bụ yunit ihe ọmụmụ abụọ. Ọ ga-eduba ụmụ akwụkwọ n'ịmụta ihe banyere ejije Igbo. Ihe ndị anyị ga-eleba anya n'ime ejije Igbo gụnyere ihe ndị a: Ihe bụ ejije Igbo, nkenụdị ejije, njirimara nkenụdị ejije nke ọbụla na mmetụta dị n'etiti ejije ederede na nke ọdịnaala. E mere ihe ọmụmụ a n'ụdị na ọ bụrụ na ụmụakwụkwọ amụchaa ya, ha ga-enwe ike kọwaa ejije ọdịnaala na ederede Igbo na mmebere ha. IGB 361 ga-ewe otu sịmesta maka ndị no n'ogo afọ atọ. Ọ bụ ihe ọmụmụ a kwadoro maka ndị na-agụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ dịka otù ihe n'ime ihe ha ga-amụ na mahadum. Ihe ọmụmụ a nwere modul atọ, modul atọ ndị a metụtara nkọwa ejije, nkenụdị nakwa ntolite ejije Igbo. E jikwa akwụkwọ nrụtụaka wee lebaa anya na nkenụdị ejije e nwere n'Igbo.

**Mkpọlite Ihe Ọmụmụ IGB 361**

Ejije bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ nke dị mkpa na nwata akwụkwọ ọbụla na-amụ maka agụmagụ ga-agba mgbọrọgwụ na ya. Ihe ọmụmụ a ga-edubanye ụmụakwụkwọ n'ejije ederede na ejije ọdịnaala Igbo ma mee ka ha mata mmebere na njirimara nke ọbụla.

Akwụkwọ ntụziaka ihe ọmụmụ a ga enye aka n'ebe ọ dị mfe ịkọwapụta ihe ihe ọmụmụ a bụ, ngwá nkuzi ihe ndị dị mkpa maka ihe omụmụ a na etu ngwá nkuzi a ga-esi bụrụ ihe bara uru. O nyere ntuziaka maka oge a tụrụ anya a ga-eji mụọ yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla. O nyekwara ntuziaka dịka o si metụta ihe omume onye nkuzi ga-eleba anya. Ọ bụ ihe dị oke mkpa na ị ga na-aga n'ihe ọmụmụ ndị a chịkọbara; ka gị na ndị nkuzi/ntuziaka gị wee nwee ntulerikọta uche maka ihe ndị gbagwojuru gị anya.

**Mbunuche Izugbe**

A kwadoro ihe ọmụmụ a ka ọ bawanye nghọta ụmụakwụkwọ n'ihe gbasara agụmagụ ederede na ọdịnaala Igbo n'ụzọ ọbụla. A tụrụ anya na ihe ọmụmụ a ga-eme ka:

a. Ụmụakwụkwọ nwee ike ịkọwa ihe bụ ejije Igbo.
b. Mata nkenụdị ejije Igbo.
c. Mata ihe bụ ejije ọdịnaala Igbo, ntọlite ya, nkenụdị ya na mmebere ya.
d. Mata ihe bụ ejije ederede Igbo ntọlite ya, nkenụdị ya na mmebere ya.
e. Mata ụfọdụ akwụkwọ ejije Igbo e biputaraala malite n'afọ 1974 rue 2020.

**Mbunuche Kpọm kwem**

E nwere ihe a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-amụtarịrị na yunit ọbụla n’ime yunit iri na abụọ. Ọ ga-aka mma ibu ụzọ gụọ mbunuche ndị a tupu a gụọ ihe ndị metụtara yunit ọbụla. A tụrụ anya na tupu ụmụakwụkwọ amụchaa ihe ọmụmụ a, ha ga-enwe ike:

i. Kọwaa ihe bụ ejije Igbo.
ii. Kwuo nkenụdị ejije Igbo
iii. Kọwaa mmebere izugbe ejije
iv. Kwuo etu ejije ọdịnaala Igbo siri tolite.
v. Kọwaa nkenụdị ejije ọdịnaala Igbo
vi. Kwuo njirimara ejije ọdịnaala Igbo.
vii. Kọwaa ejije ederede Igbo.
viii. Kwuo nkenụdị ejije ederede Igbo
ix. Kọwaa njirimara ejije ederede Igbo
x. Kwuo mmetụta dị n’etiti ejije ederede na nke ọdịnaala
xi. Gụpụta ụfọdụ akwụkwọ ejije ederede Igbo

**Nkọwa Ihe Ọmụmụ**

Iji hụ na e mere ihe niile e nwere n’ihe ọmụmụ a, ị ga-agba mbọ hụ na ị gụrụ yunit niile e nwere na ya. Gụọ akwụkwọ ndị e nyere maka ihe ọmụmụ a nakwa akwụkwọ ndị NOUN họpụtaara gị. Yunit ọbụla nwere nchịkọta, mmechi na nnwale Onwe, gbaa mbọ hụ na i mere nnwale onwe niile dị na ngwụcha yunit ọbụla. Gbaa mbọ gụgharịa ihe omume/ọrụụlọ ndị ahụ onyenkuzi lebara anya n’ihi na ọ ga-enyere gị aka ịghọtawanye ihe ọmụmụ a.
A ga-anwale ihe ndị ị mụtara site n’ọrụụlọ ndị ahụ onye nkuzi lebara anya. Ọ bụrụ na a mụchaa ihe ọmụmụ IGB 361 INTRODUCTION TO DRAMA IN IGBO, a ga-ele ule ikpeazụ. A tụrụ anya na ihe ọmụmụ a ga-ewe izu ụka iri abụọ. Ọ bụ oke na ọrụ dịịrị gị itinye oge ihe ọmụmụ maka yunit ọbula n’ihi na nke a ga-enyere gị aka ịhụ na i mechara ihe ọmụmụ a n’oge.

**Ngwá Ihe Ọmụmụ**

Ngalaba maọbụ mmewere ihe ọmụmụ a ndị kachasị gba elu gụnyere:

1. Yunit Ihe ọmụmụ

2. Akwụkwọ Ọgụgụ

3. Faịlụ Ntinye Ihe omume

4. Usoro a ga-agbaso wee mee ihe

**Yunit Ihe Ọmụmụ**

A tụrụ anya na yunit ihe ọmụmụ ọbụla ga-ewe otu izu ụka. N’ime ya, e nwere mbunuche nkuzi a tụrụ anya na ị ga-agbaso wee na-amụ ihe ọmụmụ gị. Yunit ihe ọmụmụ ọbụla nwekwara akwụkwọ ọgụgụ na nnwale Onwe. Ọrụ ụlọ onye nkuzi ga-eleba anya, yunit ihe ọmụmụ niile na nkuzi a ga-akuzi na ya ga-enyere gị aka inwetazù mbunuche niile e depụtara maka ihe ọmụmụ a. Ha dị yunit iri na abụọ nke a haziri na modul atọ. Modul na yunit ndị ahụ gụnyere:

**Modul 1 Nkọwa ejije**

Yunit 1 Gịnị bụ ejije?

Yunit 2 Nkọwa ejije Igbo

Yunit 3 Mmebere ejije

**Modul 2 Nkenụdị ejije Igbo**

Yunit 1 Ejije ọdịnaala Igbo

Yunit 2 Ejije ederede Igbo

**Modul 3 Mmetụta dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo**

Yunit 1 Ntulekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede

Yunit 2 Mmebere ejije ọdịnaala a na-ahụta n'ejije ederede Igbo

Yunit 3 Ndepụta ụfọdụ akwụkwọ ejije Igbo

Modul 1 bụ ndubanye maọbụ mkpọlite n'ihe bụ ejije n'izugbe na mmebere ejije izugbe. Tinyere nkọwa ejije Igbo. Modul 2 lebara anya na nkenụdị ejije, nkọwa ejije ederede na ejije ọdịnaala, ntọala na ntolite ejije ọdịnaala na nke ederede, njirimara ejije ọdịnaala na nke ederede. Na Modul 3, a kọwara n'uju, mmetụta dị n'etiti ejije ederede na nke ọdịnaala ma depụtakwa ụfọdụ akwụkwọ ejije ịgbọ malite n'afọ 1974 rue 2020.

E nwere yunit asatọ n'ihe ọmụmụ a. Ihe mejupụtara yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla bụ ihe ọmụmụ otu izu ụka nke gụnyere ihe kachasị mkpa a tụrụ anya na a ga-amụta, usoro a ga-agbaso wee mụọ ihe, ngwá ihe ọmụmụ ndị a ga-eji amụ ihe, na ihe nnwàle nke onwe. Tinyekwara ihe omume, ọ bụ ihe ndị a niile ga-enyere gị aka iji nweta mbunuche e ji wee mebe yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla na nke ihe ọmụmụ a n'ozuzu oke.

**Akwụkwọ Ọgụgụ Na Nrụtụaka**

Yunit ihe ọmụmụ ọbụla nwere akwụkwọ ọgụgụ na akwụkwọ nrụtụaka. Gụọ akwụkwọ ndị ahụ iji mụtakwuo n'elu nke onye nkuzi kọwara n'ime ihe ọmụmụ ndị a. I nwekwara ike ịgụ akwụkwọ ọgụgụ ndị ọzọ metụtara ihe ọmụmu a nke e depụtaghị n'akwụkwọ ntuziaka a.

**Nnwale**

E nwere usoro nnwàle n'ihe ọmụmụ a; ihe omume onye nkuzi lenyere anya na ule nke a ga-ede ede. N'ime ihe omume ndị a, a tụrụ anya na ị ga-etinye ihe ndị ị mụtara oge i na-eme ihe ọmụmụ n'ọrụ.

Ị ga-enyerịrị onye nduzi ihe ọmụmụ (tutorial facilitator) ihe omume gị ka o wee nwee ike inwale gị dịka oge e nyere na usoro akwụkwọ faịlụ si dị.

Ọrụ nke ị ga-enye onye nkuzi maka nnwàle ga-ebu maakị iri atọ (30%) n’ime maakị niile ihe ọmụmụ ahụ nwere.

### Ihe Omume

E nwere ihe omume na ngwụsị yunit nke ọbụla. A tụrụ anya na ị ga-eme ihe omume niile ndị ahụ. A ga-eme gị nnwàle na ha niile, mana atọ ndị kacha mma bụ ndị a ga-ewere maka nnwàle ugboro ugboro. Ihe omume ọbụla bu maakị pesenti iri (10%). Oge i mechara nnwàle nke ọbụla, were ya na fọọm ihe omume onye nkuzi ga-amaakị wegara onye nduzi ihe ọmụmụ. A ga-enwe faịlụ ihe omume. N’ime faịlụ a, ị ga-ahụ ihe omume ndị ahụ niile ị ga-enyefe onye nkuzi maka inye gị maakị. A ga-agbakọ maakị niile onye nkuzi nyere maka ọrụụlọ wee nweta maakị maka ihe ọmụmụ a. Ị ga-ahụ ihe gbasara ọrụ ụlọ ndị ọzọ n’ime faịlụ ihe omume na n’ime yunit ihe ọmụmụ e nwere ebe a.

Gbaa mbọ hụ na ihe omume ọbụla rutere onye nduzi ihe ọmụmụ gị aka tupu ụbọchị e nyere maọbụ ụbọchị e nyere kpọm kwem. Ọ bụrụ na o nwere ihe ọbụla ga-eme na ị gaghị emecha ọrụ gị; gbaa mbọ hụ na onye nduzi ihe ọmụmụ maara maka ya tupu ụbọchị e nyere maka iwebata ọrụ ndị ahụ eruo, ka gị na ya kparịta ma o nwere ike inyetụkwu gị oge. A gaghị agbatị maọbụ nyekwa oge ọzọ, ma e wepụ n’ọnọdụ enweghịzị ihe a ga-eme maka ya.

### Ule na Enyemmaakị

Ule ikpeazụ maka IGB 361 ga-abụ awa abụọ. O ga-ebu pesenti iri asaa (70%) n’ime maakị niile e kwesịrị inwe n’ihe ọmụmụ a.

Ihe ga-emejupụta ule ga-abụ ajụjụ ga-egosipụta ụdị nnwale nke e nwere n‘ihe omume nke onwe na ihe omume nke onye nkuzi ga-eleba anya nke e merela. Ajụjụ nnwàle ga-emetụcha aka n’ihe niile e jiri mụọ ihe. A tụrụ anya na ị ga-aza ajụjụ atọ n’ime ajụjụ ise dị n’ime ya. Ajụjụ atọ ndị a ga-enye gị maakị iri asaa; maakị iri atọ nke si na maakị onye nkuzi nyere n’ihe omume na maakị iri asaa i nwetere n’ule ga-agbakọta nye gị otu narị maakị. Ị ga-ewere ohere dị n’etiti oge i jiri mechaa yunit nke ikpeazụ na oge dị tutu ule amalite wee lebagharịa anya ọzọ n’ihe niile i mere na kọọsụ a. I nwekwara ike lebanye anya ọzọ n’ọrụ nnwale nke onwe na ihe omume tupu ule amalite.

### Usoro Enyemmaakị

Tebulu 1 a kọwara etu a ga-esi kerisie maakị a ga-enweta n’ihe ọmụmụ a:

| **Ihe Omume** | **Maakị** |
|---|---|
| Ihe Omume | Ihe Omume atọ kacha mma ka a ga-eji nye maakị iri atọ (30%) n’ime maakị niile a ga-enweta n’ihe ọmụmụ a. |
| Ule ikpeazụ | Ule ikpeazụ ka a ga-eji nweta maakị iri asaa (70%) nke ihe ọmụmụ a. |
| Mgbakọta ihe niile | Pasentị ihe ọmụmụ a bu bụ otu narị (100%) |

**Ndịna Ihe Omume A**

Tebulu 2 a dị n’okpuru gosiri yunit niile na izuụka ole a ga-eji mụọ ihe ọmụmụ a.

| Yunit | Isiokwu ihe ọmụmụ | Ihe omume n’izu ụka | Ihe omume onye nkuzi lenyere anya |
|---|---|---|---|
| | Ntụziaka maka ihe ọmụmụ a | 1 | |

**Modul 1 Nkọwa ejije**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Gịnị bụ ejije? | 2 | |
| 2 | Nkọwa ejije Igbo | 3 | |
| 3 | Mmebere ejije | 4 | Ihe Omume 1 |

**Modul 2 Nkenụdị ejije Igbo**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Ejije ọdịnaala Igbo. | 5 | |
| 2 | Gịnị bụ ejije ọdịnaala Igbo? | 6 | |
| 3 | Nkenudi ejije ọdịnaala Igbo. | 7 | |
| 4 | Mmebere ejije dị n’ejije ọdịnaala Igbo. | 8 | |
| 5 | Njirimara ejije ọdịnaala. | 9 | Ihe Omume 2 |
| 6 | Gịnị bụ ejije ederede Igbo? | 10 | |
| 7 | Ntọala na ntọlite ejije ederede Igbo. | 11 | |
| 8 | Nkenụdị ejije ederede Igbo. | 12 | |
| 9 | Njirimara ejije ederede. | 13 | Ihe Omume 3 |

**Modul 3 Mmetụta dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo**

| | | | |
|---|---|---|---|
| 1 | Ntulekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede. | 14 | |
| 2 | Mmebere ejije ọdịnaala a na-ahụta n’ejije ederede Igbo. | 15 | |

| | | | |
|---|---|---|---|
| 3 | Ndepụta akwụkwọ ejije Igbo ụfọdụ. | 16 | |
| 4 | Nlebaghariịanya n’ihe a mụrụ. | 17 | |
| 5 | Ule. | 18 | |
| 6 | Mgbakọta. | 19 | |

**Etu A Ga-Esi Mee Ihe Omume/Nnwale**

A ga-esi n’ụzọ abụọ nwalee gị n’ihe ọmụmụ a. Ihe omume nke onye nkuzi ga-eleba anya (ga-amaakị) na uleakwụkwọ so ihe ọmụmụ. A tụrụ anya na ị ga-eme ihe omume ma nyefee ha n’aka onye nkuzi ga-eleba ha anya. Ị ga-agba mbọ nyefee ya onye nkuzi n’oge kwesịrị ekwesị. Ihe omume ga-enye pasenti iri atọ na maakị niile ị ga-enweta maka ihe ọmụmụ a.

**Ka ị ga-esi ritekarịcha uru n’ihe ọmụmụ**

N’ihe ọmụmụ a, ebe ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi nọsara anọsa, yunit ihe ọmụmụ gasị nọchitere anya onye nkuzi mahadum. Uru dị n’ụdị ihe ọmụmụ a bụ na i nwere ike ịgụ akwụkwọ ma lebakwa anya na ngwa ihe omụmụ gi n’usoro ọ masịrị gị, n’oge na n’ebe kachasị dị gị mma. Hụta ya dịka ịgụ ihe sitere na nkuzi ihe kama igere onye nkuzi. Dịka onye nkuzi nwere ike inye gị ihe omume na klaasị, yunit ihe ọmụmụ bụ ihe omume ị ga-eme n’oge o kwesịrị.

Yunit ihe ọmụmụ nke ọbụla gbasoro otu ụdị usoro. Ihe nke mbụ bụ ndubanye n’isiokwu maọbụ mkpọlite isiokwu nke yunit ahụ na etu otu yunit nke ọbụla si wee metụta yunit ndị ọzọ na ihe ọmụmụ ahụ n’ozuzuoke. Nke na-esote ya bụrụ mbunuche e nwegasịrị. Mbunuche bụ ihe ga-enyere gị aka iji mata ihe i kwesịrị imesi tupu ị bịa na njedebe ihe ọmụmụ gị. Ị ga-ewere mbunuche ndị a dịka ihe ga-eduzi ihe ọmụmụ gị. Oge i mechara ihe dị na yunit a, ị ga-alaghachị azụ, tulee ma i nwetakwara ihe ndị ahụ e bu n’uche na ị ga-enweta tupu ihe ọmụmụ yunit a agwụcha. Ọ bụrụ na ị na-eme nke a kwa mgbe kwa mgbe, ị ga-ewelite, n’ụzọ dị elu, ohere i nwere ịgafe n’ule, ya bụ, ime nke ọma n’ihe omụmụ a.

E tinyekọtara nnwàle nke onwe n’ime yunit nke ọbụla; e nyekwara azịza ha na njedebe kọọsụ a. Ime nnwàle ndị a ga-enyere gị aka inweta ihe e bu n’uche na yunit ihe ọmụmụ a ma kwadokwa gị maka ihe omume na ule. Ị ga-eme nnwàle nke onwe ọbụla ebe ọbụla ị hụrụ ya na yunit ihe ọmụmụ a. A ga-enwegasị ọmụmaatụ yunit ihe ọmụmụ a. Mee nke ọbụla oge i rutere na ya.

**Ndị Nduzi /Nkuzi**

E wepụtara awa asatọ maka nkwado ihe ọmụmụ kọọsụ a.

A ga-eme ka ị mata ụbọchị, oge na ebe a ga-anọ eme ihe ọmụmụ ndị a, tinyekwara aha, akara ekwentị onye nduzi gị ozigbo e nyere gị òtù ị ga-esonye maka ihe ọmụmụ a. Mmekọrịta nke gị na onye nkuzi ga-eleba anya n’ọrụ ụlọ gị ga-enyere gị aka. Ị ga-agba mbọ ka gị na onye nkuzi na-akpakọrịta site n’ekwenti na ụzọ mgbasa ozi ndị ọzọ ma i nwee nsogbu gbasara ihe ọmụmụ a.

Onye nduzi unu ga-etinye maakị ole i nwetara na ihe omume gị, tinyekwa anya n’ọganihu maọbụ nsogbu ọbụla ị nwere ma nyere gị aka oge a na-eme kọọsụ a.

Ị ga-ezigara onye nduzi ihe ọmụmụ ihe omume gị onye nkuzi lenyere anya n'ezi oge tupu ụbọchị e wepụtara maka ime nke ahụ. Onye nkuzi gị ga-enye maakị i nwere ma zighachịrị gị ya n'oge na-adịghị anya.

Atụfula oge ịkpọtụrụ onye nkuzi gị maọbụ degara ya ozi n'imeela ma ọ bụrụ na:

• Ị ghọtaghị akụkụ ihe ọmụmụ yunit maọbụ ihe ndị e nyere gị gụọ.

• Nnwale onwe na-enye gị nsogbu.

• I nwere ajụjụ maọbụ na ihe omume na-enye gị nsogbu; ihe onye nkụzi gị kwuru banyere ihe omume maọbụ banyere maakị e nyere gị n'ihe omume gị.

Ị ga-agba mbọ ka i sonye n'ihe ndị a na-akụzi na klaasị. Nke a bụ naanị ohere i nwere, gị na ndị nkụzi gị ịnọ ihu na ihu. Ị ga-enwekwa ohere ịjụ ajụjụ nke a ga-asa gị ozigbo. I nwere ike ịkọwatara ya nsogbu i nwere mgbe ị na-agụ akwụkwọ ihe ọmụmụ a. I ji rite ezigbo uru na nkụzi a, kaba ahụ depụta ajụjụ ndị i nwere n'akwụkwọ tupu ị bịa n'ebe a ga-anọ kuzie ihe. Ị ga-amụta ọtụtụ ihe ma ọ bụrụ na i sonye nke ọma.

**Nchịkọta**

Ebumnobi IGB 361 bụ iji kwado gị inwe ike ịmata maka agụmagụ Igbo site n'idubanye gị n'amụmamụ ejije Igbo. Na njedebe ihe ọmụmụ a, ị ga-enwe nghọta ga-edu gị ịkọwa ihe bụ ejije ịgbo, nkenụdị, njirimara, uru na ntolite ya. Ị ga-enwe ike ịkọwa mmetụta dị iche iche dị n'etiti ejije ọdịnaala na nke ederede ma matakwa akwụkwọ ejije Igbo ụfọdụ, ndị odee ha nakwa afọ mbipụta ha. Nwa akwụkwọ mụrụ ihe ọmụmụ a ga-enwe ike kọwapụta otụtụ ihe gbasara ejije ederede na ejije ọdịnaala Igbo.

Ọ bụ ekpere m na ị ga- enwe ezi ahụike na udo nke ime obi ka i wee gụọ ma ghọta ihe dị n'ihe ọmụmụ a nke ọma. Ana m atụkwa anya na ihe ọmụmụ a ga–eme ka ị nwee kpalite mmuọ idepụta akwụkwọ ejije nke gi ma tụpụtakwa echiche ga-eme ka amụmamụ agụmagụ Igbo na-agawanye n'ihu.


**NDỊNA** **IHU AKWỤKWỌ**

**Modul 1 Nkọwa ejije**

Yunit 1 Gịnị bụ ejije?

Yunit 2 Nkọwa ejije Igbo

Yunit 3 Mmebere ejije

| | |
|---|---|
| **Modul 2** | **Nkenụdị ejije Igbo** |
| Yunit 1 | Ejije ọdịnaala Igbo |
| Yunit 2 | Ejije ederede Igbo |
| **Modul 3** | **Mmetụta dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo** |
| Yunit 1 | Ntụlekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede |
| Yunit 2 | Mmebere ejije ọdịnaala a na-ahụta n'ejije ederede Igbo |
| Yunit 3 | Ndepụta ụfọdụ akwụkwọ ejije Igbo |

**National Open University of Nigeria**

National Open University of Nigeria
Headquarters
Plot 91, Cadastral Zone, University Village,
Nnamdi Azkiwe Expressway,
Jabi, Abuja.

National Open University
Headquarters
14/16 Ahmadu Bello Way
Victoria Island
Lagos

e-mail: centralinfo@nou.edu.ng
URL: www.nou.edu.ng

Published by
National Open University of Nigeria

Printed 2019
ISBN:

All Rights Reserved

**Modul 1** **Nkọwa ejije**

Yunit 1 Gịnị bụ ejije?

Yunit 2 Nkọwa ejije Igbo

Yunit 3 Mmebere ejije

**Modul 2** **Nkenụdị ejije Igbo**

Yunit 1 Ejije ọdịnaala Igbo

1.1 Gịnị bụ ejije ọdịnaala Igbo?

1.2 Nkenudi ejije ọdịnaala Igbo

1.3 Mmebere ejije dị n'ejije ọdịnaala Igbo

1.4 Njirimara ejije ọdịnaala

Yunit 2 Ejije ederede Igbo

2.1 Gịnị bụ ejije ederede Igbo?

2.2 Ntọala na ntọlite ejije ederede Igbo

2.3 Nkenụdị ejije ederede Igbo

2.4 Njirimara ejije ederede

**Modul 3** **Mmetụta dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo**

Yunit 1 Ntulekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede

Yunit 2 Mmebere ejije ọdịnaala a na-ahụta n'ejije ederede Igbo

Yunit 3 Ndepụta akwụkwọ ejije Igbo ụfọdụ

**Modul 1** **Nkọwa ejije**

Yunit 1 Gịnị bụ ejije?

Yunit 2 Mmebere ejije

Yunit 3 Nkọwa ejije Igbo

**Yunit 1: Gịnị bụ ejije?**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3. 1 Gịnị bụ ejije?

3.2 Uru ejije bara

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nnwale onye nduzi

7.0 Nrụtụaka

## 1.0 Mkpọlite

Agụmagụ bụ ihe ọbụla mmadụ chepụtara, gụpụta, mepụta maọbụ detuo n'akwụkwọ ka ndị ọzọ gee, lee maọbụ gụọ. Ọ bụ ọrụ nka sitere n'ekereuche mmadụ. Ndịna ọrụ agụmagụ nwere ike ịbụ omereme maọbụ arọrọarọ. E nwere nkenụdị agụmagụ abụo – Agụmagụ ọdịnaala na agụmagụ ederede. Agụmagụ ọdịnaala bụ ọrụ nka ndị ahụ dị ọkpụ nke a maghị onye maọbụ ndị chepụtara ha maọbụkwanụ oge ha jiri malite. A na-akpọkwa ha agụmagụ ọnụ n'ihi na e detughị ha edetu. N'aka nke ọzọ, agụmagụ ederede bụ agụmagụ ndị ahụ e depụtara n'akwụkwọ ka ndị mmadụ gụọ. E kewara agụmagụ ngalaba atọ site n'usoro nziputa ha. Ngalaba agụmagụ bụ- Abụ, Akụkọ na Ejije. Abụ na akụkọ bụ agụmagụ ndị a na-agụpụta agụpụta ebe ejije bụ agụmagụ ndị a na- emepụta emepụta.

**2.0 Mbunuche**

Na njedebe yunit a, ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

i. Ịkọwa ejije

ii. Ịmata ejije dịka otu n'ime ngalaba agụmagụ

iii. Ikwu uru ejije bara

**3.0 Ndịna kpọmkwem**

**3.1 Gịnị bụ ejije?**

Dịka aha ya siri dị, ejije bụ njije ihe na-eme nakwa ihe e chere nwere ike ime na ndụ maọbụ n'ụwa. E nwere ike ịkọwa ejije dịka agụmagụ (literature) nakwa dịka ngosipụta emereme (performance). Dịka agụmagụ, ejije bụ akụkọ e ziputara n'ụdị mkparịtaụka n'etiti agwa nke e mere ka e mepụta n'elu nkwago, n'ihu ndị nkiri. Ọ bụ akwụkwọ agụmagụ ndị ahụ a na-edepụta okwu nakwa mmegharị agwa ma nyekwa ntuziaka etu a ga-esi mmepụta emereme n'elu nkwago. Ejije bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ atọ e nwere. Agụmagụ nwere ụzọ abụọ e si eziputa ya - nchepụta/ndepụta (composition) na ngosipụta (performance). Nchepụta/ndepụta gụnyere iji nka na ekereuche wee depụta maọbụ gụpụta ihe ebe ngosipụta bụ isite na mmegharị akụkụ ahụ dị iche iche wee zipụta ihe maọbụ emereme. N'ime ngalaba agụmagụ atọ ndị a, ọ bụ naanị ejije ka a na-egosipụta egosipụta. Mgbe ọbụla e gosipụtara abụ maọbụ akụkọ, ha aghọrọ ejije. N'otu aka ahụ, mgbe ọbụla agụpụtara maobụ kọpụtara ejije, ọ ghọrọ abụ maọbụ akụkọ. Nke a mere ụfọdụ mmadụ ji akọwa ejije dịka abụ maọbụ akụkọ e gosipụtara egosipụta.

Dịka ngosipụta emereme, ejije bụ emereme obụla e mepụtara n'ebe nkiri, nke a na-esite n'olu nakwa mmegharị ahụ agwa dị iche iche wee zipụta akụkọ maọbụ emereme, n'ihu ndị nkiri. Ihe nke a pụtara bụ na ejije bụ akụkọ e nyere ndụ. Mgbe anaghị egosipụta ejije egosipụta, ọ bụ agụmagụ ma mgbe e mepụtara ya emepụta, ọ bụrụ ngosiputa emereme. Ọzọkwa, mgbe ejije bụ agụmagụ, anaghị enwe ndị nkiri kama a na-enwe ndị ọgụụ ma mgbe ọ bụ ngosiputa emereme, a ga-enweriri ndị nkiri.

Ọ dị mkpa ikwu na ejije na-ezu oke maọbụ adi ire naanị mgbe e gosipụtara ya egosipụta; n'ihi na tupu a kpọọ ọrụ agụmagụ maọbụ ọrụ nka ọbụla ejije, a ga-enweriri njije maọbụ nṅọmi. Nke a pụtara na agwa maọbụ mmadụ ga-agbanwe akparamagwa nke ya, yiri awọrọ onye maọbụ ihe ọzọ

ma na-akpakwa agwa ka onye maọbụ ihe ahụ. Ejije dịka agụmagụ anaghị ezipụta njije maọbụ nṅomi. Ejije dịka agụmagụ maọbụ ngosipụta emereme na-akụzị ọkpụrụkpụ ihe maka mgbazi ndụ.

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ ejije?

2. Ejije bụ akụkọ e nyere ndụ. Kọwaa echiche a

3. Olee ụzọ abụọ e si ezipụta ejije?

4. Kọwaa ejije dịka agụmagụ na ejije dịka ngosipụta

5. Kedụ ihe mere ejije ji dị iche na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ?

### 3.2 Nkọwa ejije Igbo

E nwere ndọrọ ndọrọ banyere ọrụ nka ndị e nwere ike ịkpọ agụmagụ Igbo. N'otu aka bụ Ọkankuzi Emenanjọ, N., Ugonna, N., Nwadike, I. U. na ndị ọzọ, ndị kwenyere na ọ bụ naanị akwụkwọ agụmagụ ndị e dere n'asụsụ Igbo maọbụ ndị a tụgharịrị site n'asụsụ ọzọ banye n'asụsụ Igbo bụ ihe tosiri ịza agụmagụ Igbo. N'echiche ha, agụmagụ Igbo bụ agụmagụ nwaafọ Igbo dere n'asụsụ Igbo maka ndị Igbo. N'aka nke ọzọ bụ Ọkankuzi Emeyọnụ, Chinua Achebe na ndị ọzọ, ndị kwenyere na ejije ọbụla na-ezipụta nkwenye na omenaala Igbo nakwa nke nwaafọ igbo dere n'agbanyeghị asụsụ o ji dee ya tozuru ịza agụmagụ Igbo. Ka o sila dị, o kwere nghọta na ekewara agụmagụ mba ụwa dum site n'asụsụ nke mere ka e nwee agụmagụ bekee, agụmagụ Frensh, agụmagụ Yoruba dgz. Nke a pụtara n'asụsụ e ji dee ọru bụ ihe mgbakwasa ụkwụ maọbụ nlekwasi anya n'ịhanye ọrụ agụmagụ. N'ihi ya, ejije Igbo, bụ ọrụ nka ndị ahụ e deputara maọbụ e gosipụtara n'asụsụ Igbo nke na-ezipụta keesirihụ ndụ, nghọta na nkwenye ndị Igbo.

### 3.2 Uru ejije bara

Dịka otu n'ime ngalaba agụmagụ, ejije nwere uru ọ na-aba ndị gụnyere:

1. Ikpa obi ọma: Dịka Aristọtụl si kọwa, ịkpa ndị mmadụ obi ọma bụ isi sekpụ ntị n'ọrụ niile agụmagụ na-arụ. Site n'ikiri ejije dị iche iche, ndị mmadụ na-anọrị oge ma chefuo nsogbu maọbụ mkpa dị iche iche na-akpa ha.

2. Ikuzi ezi omume na iwu obodo: site n'ejije, a na-ezipụta akparamagwa dị iche iche nakwa ụgwọọrụ akparamagwa nke ọbụla. N'ụzọ dị etu a, ndị mmadụ ga-amata akparamagwa ndị bụ ajọ omume nakwa ndị bụ ezi omume. Ndị na-eme ajọ omume ga-amatakwa ihe nwere ike izute ha ma ọbụrụ na ha echahaghị. Ndị na-eme ezi omume na-anatakwa agbamume.

3. A na-esite n'ejije amata ma chekwaba akụkọala: site n'ejije, a na-ezipụta ihe ndị mere n'oge gara aga. Ihe ndị a mere n'oge gara aga nwere ike ịbụ akụkọ gbasara dike, agha maọbụ akụkọ mmalite obodo. Ọmụmaatụ, emume 'Ịgba ada' nke ndị Anam n'Anambra steeti na-eme bụ akụkọala banyere agha ha na ndị Abọ na Delta steeti lụrụ n'oge gara aga. N'ụzọ dị etu a, ejije na-enyere aka ichekwaba akụkọala.

4. A na-ezipụta omenaala na nkwenye ndị n'ejije: Ejije tụmadị nke ọdịnaala hiwere isi n'omenaala obodo dị iche iche. Nke a pụtara na a na-esite n'ejije amata omenaala nakwa nkwenye ndị. Omụmaatụ, site n'ejije mmọnwụ, a na-amata nkwenye ndị Igbo banyere ndị nwụrụ anwụ.

5. Ejije na-apụta ihe n'usoro ekpemekpe dị iche iche: ndị otu ekpemekpe ọbụla nwere usoro ofufe nru ha. Usoro ofufe nru ndị a gụnyere iṅomi maọbụ njije chi a na-ekpere. Nke a pụtara n'ejije na-enyere aka n'ekpemekpe.

6. Ejije so n'otu usoro e si akụziri mmadụ ihe: ọ bụ site na njije akparamagwa onye ọzọ ka mmadụ si amụta ihe. Ihe niile mmadu na-eme dịka isi nri, ịza ulọ, ịkpa isi, ịkọ ugbo dgz bụcha site na njije ka e si amụta ha. Nke a pụtara na ejije bụ usoro nkuzi.

**Nnwale onwe 2**

1. Depụta ma kọwaa uru ise ejije bara.

**4. Mmechi**

Ejije bụ ngalaba agụmagụ nke e kwesiri imepụta emepụta. Ọ dị iche n'abụ na akụkọ. Ejije nwere ike ịbụ ihe ngosipụta maọbụ agụmagụ. Ejije dịka ọrụ nka, nwere uru pụrụ iche ọ na-aba n'ọhaobodo nke gụnyere nkuzi, mgbazi nakwa ịnọrị oge. Akụkụ ndụ ejije na-emetuta gụnyere ọchịchị, ekpemekpe, nkwenye, omenaala dgz.

**5.0 Nchịkọta**

Ejije bụ akụkọ e zipụtara n'ụdị mkparịtaụka n'etiti agwa nke e mere ka e mepụta n'elu nkwago, n'ihu ndị nkiri. Ọ bụ otu n'ime ngalaba agụmagụ atọ e nwere. N'ime ngalaba agụmagụ atọ ndị a, ọ bụ naanị ejije ka a na-emepụta emepụta.

E nwere ike igosipụta ejije n'ihu ndị nkiri maọbụ agụpụta ya dịka agụmagụ. Ejije na-ezu oke naanị mgbe e mepụtara ya n'ihu ndị nkiri.

Ejije na-arụ ọrụ nkuzi, mgbazị, nduzi, nchekwaba, ịkpa obi aṅụrị na ịnọrị oge n'ọhaobodo. Ụfọdụ ndị jikwa imepụta ejije mere akaọrụ.  Uru ndị a mere ka ejije dịka ọrụ nka dị mkpa na ndụ mmadụ.

**6.0 Nnwale onye nduzi**

1. Gịnị bụ ejije?

2. Kedụ ihe kewapụrụ ejije na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ?

3. Kedụ usoro abụo si ezipụta ejije?

4. Depụta ma kọwaa uru anọ ejije bara

**7.0 Nrụtuaka**


Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). Australia: Wadsworth Cengage Learning.

Achebe, C. A. (1965). Where angels fear to tread. *Nigeria Magazine*, 75, December p 62.

Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature*. Lagos: Princeton..

Emenajo, E. N. (1982). What is creative literature? The case of Igbo. *Journal of SPILC*, 2(1), 35-46.

Emenanjo, E. N. (1987). Creative literature in African languages: The example of the Igbo. *Nka*, 1, 80-93.

Emenyonu, E. N. (1975).Who does Flora Nwapa write for? *African Literarture Today*, 7, 28-33.

Ezeaku, A. (2014). *Fundamentals of literature*. Awka: Fab Anieh

Goring, P., Hawthorn, J., & Domhnall, M. (2010). *Studying literature*. London: Bloomsbury Publishing

Kennedy, X. J. & Gioia, D. (2010). *Literature: An introduction to fiction, poetry and writing* (11th ed.). New York: Longman/ Pearson.

Kirszner, L. G. & Mandel, S. R. (2004). *Literature: Reading, reacting and writing literature* (5th ed.). Australia: Thomson Wadsworth.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Uzochukwu, S. (2012). *Nnyocha akanka*. Obosi: Pacific Correspondence College Press.

**Yunit 2 Mmebere ejije**

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3. 1 Agwa na akparamagwa

3.1.1 Udị agwa dị iche iche

3.1.2 Nkewa agwa dị iche iche

3.1.3 Usoro nzipụta akparamagwa dị iche iche

3.2. Nhazi akụkọ

3.2.1 Mmebere nhazi akụkọ

3.2.2 Ọdịdị nhazị akụkọ

3.2.3 Ịdị n'otu oge, ebe na emereme

3.3 Asụsụ

3.3.1 Mkparịtaụka

3.3.2 Nhọokwu

3.3.3 Olu

3.4 Nṅomi na Njije

3.5 Nkwagọ

3.5.1 Arịa

3.5.2 Ekike/ejiji

3.5.3 Etemete

3.5.4 Ụcha ọkụ latriki

3.6 Ntọala

3.6.1 Ntọala ebe

3.6.2 Ntọala oge

3.6.3 Ntọala gburugburu

3.6.4 Ntọala ihu igwe

3.7 Mkpatara

3.8 Emereme

3.9 Egwu

3.10 Nkwekọrịta ndị omee na ndị nkiri (conventions)

3.10.1 Nkwụsi ekweghị ekwe

3.10.2 Ọkọ akụkọ (Narrator)

3.10.3 Nkwuruonwe omee (Aside)

3.10.4 Nkwupụta echiche omee (soliloquy)

3.11 Isiokwu

3.12 Ndị nkiri

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nnwale onye nduzi

7.0 Nrụtụaka

**1.0 Mkpọlite**

E nwere ihe ọ ga-abụ ahụ n'ọru agụmagụ ọbụla, a mara na ọrụ ahụ bụ ejije. Ihe ndị ahụ ka a na-akpọ mmebere ejije. Mmebere ejije bụ ihe ndị ahụ kwesiri ịdị n'ejije ọbụla. Mmebere ejije bụ njirimara ejije. Ma e nweghị ihe ndị a, agaghị enwe ike idepụta maọbụ mepụta ejije. Mmebere ejije bụ ihe ndị ahụ na-eme ka ejije dị ire. A ga-eleba anya na mmebere ndị a n'otu n'otu.

**2.0 Mbunuche kpọmkwem**

Na njedebe yunit a, ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

1. Imata mmebere ejije dị iche iche

2. Ịkọwa mmebere ejije nke ọbụla

3. Ikwu mmetụta dị n'etiti mmebere ejije

**3. 1 Agwa na akparamagwa**

Agwa bụ mmadụ, anụmanụ, maọbụ ihe ndị na-emepụta emereme n'ejije. Ha bụ ndị na-esite n'okwu ọnụ na mmegharị ahụ wee zipụta akụkọ na isiokwu dị n'ejije. Akparamagwa bụ ọrụ nakwa omume agwa nke ọbụla na-ezipụta. Ọmụmaatụ, na *Nkemjika* nke G.I. Nwaozuzu, Eze Onyekwere bụ agwa ebe akparamagwa ya bụ eze na-achị obodo Ụmụeleme na dị Ugochi na Achalu. N'ime akparamagwa Eze Onyekwere ndị a, ọrụ ya bụ na ọ bụ eze ebe omume ya bụ na ọ bụ onye megburu nwunye ya nke mbụ, onye na ejighị nwa nwaanyị kpọrọ ihe dgz. Agwa na akparamagwa bụ isi sekpụ ntị na mmepụta ejije.

**3.1.1 Udị agwa dị iche iche**

Site n'etu ha siri nyere aka n'ibupụta nhazi akụkọ nakwa ụdị akparamagwa ha, e nwere ụdị agwa ndị a:

**A. Agwa ukwu** (main/major characters): ha bụ agwa ndị ahụ akparamagwa ha dị oke mkpa. Nke a pụtara na e wepụ emereme ha, ejije agaghị adị ire. Ha bụ agwa ndị ahụ a na-akọ akụkọ ha n'ejije. Ndị nkiri maọbụ ọgụụ na-achọ ịmata ihe mere ha na ngwụcha. Agwa ukwu bụ ndị na-ebute ma

na-esonye na ndọrọ ndọrọ n'ejije ọbụla. Ha na-esonye bido n'isi rue na ngwụcha ejije. Agwa ukwu gụnyere isiagwa, ndọrọ isiagwa, dike, na ndọrọ dike.

**B. Agwa nta** (minor characters): Agwa nta bụ agwa ndị ahụ akparamagwa ha adịchaghị oke mkpa n'ejije. Nke a pụtara na e wepụ ha, emereme ejije agaghị ezu oke mana nghọta maọbụ mpụtara ejije ahụ ga-ezu oke. E nwere ike ịhụ agwa nta na mbido, etiti maọbụ na ngwụcha. Ha anaghị anọ site na mbido rue na ngwụcha. Ọrụ ha bụ ịgbanyere emereme agwa ukwu aja n'ukwu. Ụfọdụ oge, agwa nta na-abụ agwa ọdịmara nke a na-esite na ya mara ihe mere n'oge gara aga maọbụ ihe ga-eme n'ọdịniihu. E nwere ụdị agwa nta atọ:

**i. Onye a na-akọsara** (confidante) nke a bụ agwa nta isiagwa na-akọsara mbunuche ya. Onye a na-akọsara ga-agbaziri isiagwa ụzọ o chere kacha mma ọ ga-esi apụta na ndọrọ ndọrọ ya. O were ike isi ka ha gaa nke dibia ga jụta ase. N'ejije fim Igbo, nwunye eze, onowu maọbụ ndị nze na-arụkarị ọrụ onye a na-akọsara.

**ii. Agwa ogbi/mmeju**(piece of furniture character): ndị a gụnyere agwa ndị ahụ na-apụta ihe naanị n'otu emume. Ha nwere ike ịbụ ndị nkiri, ndị ọha obodo, ndị na-eme ngafe dgz. Akparamagwa na emereme ha anaghị etinye maọbụ wepụ na nhaziakụkọ. Ufọdụ oge, anaghị anụ olu ha. Ọmụmaatụ, ndị niile gbakọrọ ikiri

**CH. Isiagwa** (protagonist): Isiagwa bụ agwa a hụrụ wee hiwe ejije. Emereme niile na- agba ya okirikiri. Ọ bụ agwa kacha pụta ihe maọbụ agwa nọ n'isi emereme. Ọmụmaatụ, n'*Ọjaadịlị,* ọ bụ Ọjaadịlị bụ isiagwa. Na *Nwata Rie Awọ,* Awọrọ bụ isiagwa. Ọ dị mkpa ikwu na ọbughị iwu na ọ bụ naanị agwa na-eme ezi omume na-abụ isiagwa. N'agbanyeghị omume ya, agwa kacha pụta ihe n'agụmagụ maọbụ nna mmepụta bụ isiagwa. Ọmụmaatụ, Awọrọ na *Nwata Rie Awọ,* bụ isiagwa n'agbanyeghị akparamagwa ya.

**D. Ndoro isiagwa** (antagonist): Nke a bụ agwa ya na isiagwa na-ama aka. Ndọrọ isiagwa nwere ike ịbụ agwa ọzọ, ọnọdụ dịka agha, ụbịam, maọbụ ajọ omume nke na ahịara isiagwa ahụ ịkwụsị. ihe ọbụla ọ bụ, ndọrọ isiagwa na-echere isiagwa aka mgba. Ọmụmaatụ ndọrọ isiagwa bụ, Ọ bụghị iwu na ndọrọ isiagwa ga-abụrịrị onye ajọ omume. Ọ bụrụ na isiagwabụ onye ajọ omume, ndọrọ ya ga-abụ onye maọbụ ndị onye ezi omume. Mgbe ọbụla isiagwa bụ onye ajọ omume, ọ na-enwe karịa otu ndọrọ isiagwa. Ọmụmaatụ, n'*Ọjaadịlị,* Ọjaadịlị bụ isiagwa nke na-eme nga nga. Nke a

mere ka ọ lụsoo ma mmadụ, anụmanụ na mmụọ (chi ya) ọgụ. N’ebe a, mmadụ, anụmanụ nakwa mmụọ bụcha ndọrọ isiagwa ma ha abụghị ndị ajọ omume.

**E. Dike**(hero): Nke a bụ agwa na-agabiga nhịahụ dị iche iche ka ọ wee zọpụta onwe ya, agwa ọzọ maọbụ ọhaneze. Agwa dike na-akpa ike site n’ime ihe e chere na ọ gaghị ekwe omume. Ọ bụ ya na-anapụta onwe ya maọbụ agwa ọzọ n’aka onye maọbụ ndị na-emekpa ha ahụ. Agwa dike bụ agwa na-egbo mkpa ma nwete olileanya mgbe olileanya adịghị. Dike na-abụkarị onye ezi omume mana ụfọdụ oge, a na-enwe dike nwere ntụpọ n’agwa ya nke a na-akpọ **dike zutere ọdachị** (tragic hero). Dike zutere ọdachị bụ ụdị dike nke omume ya bụ ihe na-echere ya aka mgba. Aristọtụl kọwara ‘Harmatia’ nke pụtara mpako (nga nga) maọbụ onwe mmadụ ịtụ ya n’anya nke ukwuu dịka ntụpọ agwa kacha ebutere dike ọdachi. Ọmụmaatụ

**F. Ndọrọ dike** (villain): Ndọrọ dike bụ onye ọjọọ nọ n’ejije ọbụla. Ọ bụ ụdị agwa nke na-eme ndị ọzọ ihe anya mmiri na obi mgbawa. Ọ na-emekpa agwa ndị ọzọ ahụ. A na-atụrụ ya egwu nke ukwuu ma na-eze ya eze. Ọ dị mkpa ikwu na ndọrọ dike dị iche na ndọrọ isiagwa. Dika e si kọwaa, ọbụghị iwu na ndọrọ isiagwa ga-abụ onye ajọ omume mana ndọrọ dike ga-abụrịrị onye ajọ omume. Ọzokwa, ndọrọ isiagwa nwere ike ịbụ ihe a na-ahụ anya maọbụ ihe a naghị ahụ anya mana ndọrọ dike ga-abụrịrị ihe a na-ahụ anya nwere ndụ dịka mmadụ maọbụ anụmanụ. Ihe ọzọ e ji amata ndọrọ dike bụ na ọ na-anata ntaramahụhụ n’ikpeazụ. Ajọ omume ndorọ dike gụnyere, izu ohi, igbu ọchụ, ịtụ asị, ịbọ ọbọ dgz.

**G. Agwa mkpughe** (foil): Nke a bụ ụdị agwa na-agba ike na adịghị ike agwa ọzọ na-anwụ site n’akparamagwa ya. Agwa na-eme ezi omume na-abụ agwa mkpughe nye agwa na-eme ajọ omume. Isiagwa na ndọrọ isiagwa; dike na ndọrọ dike na-abụrụ onwe ha agwa mkpughe. Agwa ndị ọzọ nwekwara ike ịbụrụ onwe ha agwa mkpụghe. Ọmụmaatụ na *Nkemjika,* Ugochi bụ agwa mkpughe nwunye di ya bụ Achalu n’ihi na site n’etu Achalu si ebute okwunụka, a hụtara Ugochi dịka onye na-achọ udo.

**GH. Agwa ọdịmara** (symbolic characters): Nke a bụ agwa ndị ahụ nwere karịa otu mpụtara. Ha na-anọchite anya agwa ha nakwa ihe ọzọ dị ọkpụrụkpụ n’omenaala, nkwenye maobụ ọdịnaala ndị. Ọmụmaatụ agwa ọdịmara bụ mmọnwụ. N’ejije, mmọnwụ na-akpa agwa e nyere ya ma na-anọchitekwa anya ndịichie maọbụ ndị nwụrụ anwụ. Dibịa afa nke a na-akpọkarị ezemmụọ bụkwa agwa ọdịmara ọzọ n’ihi na ha na-anọchite anya ụmụ mmụọ ndị a na-ahụta ka ndị ka mmadụ n’ogo ma kakwa ya ike.

**GW. Agwa omekaakpọrọ ya** (eponymous characters): Nke a bụ agwa aha ya na aha ejije ahụ bụ otu. Ụfọdụ oge agwa omekaakpọrọ ya na-akpa agwa dịka aha ya siri dị. Agwa omekaakpọrọ ya na-abụkarị isiagwa n'ejije. Ọmụmaatụ, Ọjaadili n'*Ọjaadịlị,* bụ agwa omekaakpọrọ ya n'ihi na aha ya na aha ejije bụ otu.

**H. Agwa ezeamanaọga-echi** (stereotypical characters): Nke a bụ ụdị agwa ndị nkiri maọbụ ndị ọgụụ na esite na mbido kaa ihe ha nwere ike ime na nke ha enweghị ike ime. A na-amata mbido na njedebe emereme ụdị agwa a maka ndị nkịrị maọbụ ndị ọgụụ ahụtala ya ugboro ugboro nke mere na ọdịghịzị eju ha anya. Ụdị agwa a na-enwe otu akparamagwa ebe niile a hụrụ ya. Ọmụmaatụ, n'*Eruru,* … bụ agwa eze a ma na ọ ga-echi n'ihi n'akụkọ nakwa n'ejije, a mara ndị nwunye di dịka ndị na-emegbu nwa nwunye di ha. N'otu aka ahụ, Eruru bụkwa agwa ezeamanaọga-echi n'ihi na ọ bụ enwe nne enwe. N'akukọ nakwa n'ejije, agwa enwe nne enwe nna bụ onye a na-emegbu emegbu na mbido mana n'ikpeazụ, o nwee mmeri.

**I. Agwa mkpaọchị** (clown/jester): nke a bụ agwa na-akpa ndị mmadụ ọchị site n'ejiji ya maọbụ n'emereme ya. Ọtụtụ oge, ọ na-apụtakarị oge e nwere nkobielu iji mee ka obi ndị mmadụ zidata. E jikwa nkọgheri nwere mara ụdị agwa a. Ọmụmatụ,

**3.1.2 Nkewa agwa dị iche iche**

Nkewa agwa bụ nhazi ọdịdị agwa so n'ejije site n'etu ha si nyere aka n'ịkwalite nhazi akụkọ n'ejije. Ụfọdụ mmadụ ahaziela ọdịdị agwa so n'agụmagụ.

**1. Ọdịdị agwa Forster 1927**

Forster bụ onye mmepụta ejije, kewara agwa niile so n'ejije ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ - agwa ndagharị na agwa rarịị.

**Agwa ndagharị (Round/dynamic characters)** bụ agwa ndị ahụ na-enwe mgbanwe n'akparamagwa ha. Agwa ndagharị na-esonye n'ihe chi fotere. Dịka ọnọdụ na-agbanwe, ka akparamagwa ụdị agwa a na-agbanwe. Njirimara ụdị agwa a, bụ na ọgụụ maọbụ ndị nkiri enweghị ike ịka ihe o nwere ike maọbụ o nweghị ike ime. Mgbanwe a na-ahụta n'ebe agwa ndagharị nọ na-abịa n'ụzọ abụọ. Nke mbụ bụ mgbanwe n'omume ebe nke abụọ bụ mgbanwe n'ọnọdụ. Mgbe agwa na-adịghị ezu ohi ji maka nhịahụ maọbụ ụdị enyi o nwere zuwe ohi, o nweela mgbanwe n'omume ya. N'otu aka ahụ, mgbe ogbenye mechara bụrụ ọgaranya, ọ nweela mgbanwe n'ọnọdụ

ya. Agwa ndagharị nwere ike inwe akparamagwa ọjọọ na mbido mechaa tụgharịa kpawa ezi agwa maọbụ o jiri ezi akparamagwa bido mechaa tụgharịa kpawa ajọ agwa. Ụfọdụ na-enwe ọtụtụ mgbanwe dịka, na mbụ ọ na-eme ajọ omume, e mechaa o mewe ezi omume na ngwụcha, ọ lọghachị n'ajọ ọmume. Agwa ndị na-agabiga ọtụtụ mgbanwe n'akparamagwa ka a na-akpọ **agwa ntụgharị (dynamic characters)**. N'ihi na agwa ndagharị na-ezipụta ndụ mmadụ, e nwere ụdị agwaa ka nke a kpụrụ nke ọma. Ọmụmaatụ

**Agwa rarịị (flat/static characters)**

Agwa rarịi bụ ụdị agwa ahụ na-anaghị enwe mgbanwe n'akparamagwa ha. Ha na-akpaotu agwa site na mbido wee rue na ngwụcha. Mgbanwe n'ọnọdụ ụdị agwa a anaghị eme ka akparamagwa ya gbanwee. Agwa rarịị jiri ezi omume bido, ọ ga-emegide ezi omume rue na njedebe. N'otu aka ahụ, ọ jiri ajọ omume bido, ọ ga-akpagide ajọ omume rue na ngwụcha. Ọtụtụ ndị ọkachamara n'ihe banyere agụmagụ na-akatọ udị agwa n'ihi na ọ naghị ezipụta ndụ na obibi ya. N'uche ha, mmadụ na-agbanwe agbanwe mana- eto eto. Etoghị eto maọbụ agbanweghị agbanwe agwa rarịị mere e ji akọwa ya ka agwa a na-akpụghị nke ọma. Ọmụmaatụ agwa rarịị bụ

**ii. Ọdịdị agwa Nwadike (1995)**

Nwadịke bụ onye ọkachamara n'amụmamụ agụmagụ Igbo. O kewara ọdịdị agwa ụzọ atọ.

**1. Agwa oke mpụta ihe** (Very active characters): nke a gụnyere agwa ndị ahụ pụtara ihe ugboro ugboro nke ọma n'ejije. Emereme ha dị oke mkpa nyere nhazi akụkọ ejije ọbụla. Ha bụ agwa ndị ahụ na-ebu ndọrọ ndọrọ isi. Ọmụmaatu, n' *Ifeatu,* Ibeziakọ, Azụanụka na Ifeatu bụ agwa oke mpụta ihe. Agwa oke mpụta ihe na-abụ isiagwa, ndọrọ isiagwa, dike na ndọrọ dike.

**2. Agwa mpụta ihe** (Active characters): Agwa mpụta ihe gụnyere agwa ndị ahụ akparamagwa ha apụtaghị ihe nke ukwuu mana emereme ha dị mkpa n'ejije. Ihe dị iche na agwa mpụta ihe na agwa oke mpụta ihe bụ na agwa mpụta ihe anaghị esonye na ndọrọ ndọrọ. Ha were ike ibute ndọrọ ndọrọ maọbụ soro gboo ya mana ha anaghị anọ n'etiti ya. Ọmụmaatụ ha gụnyere Ụkatụ, Obidiya na Adaeze n' *Ifeatu.*

3. **Agwa ndakpu** (Passive/dormant characters) ndị a gụnyere agwa ndị ahụ e ji emeju emere n'ejije. Ha bụ agwa ndị ahụ a kpọrọ aha maọbụ a hụtara naanị otu ugboro maobụ ugboro abụọ

n’ejije. E nweghị ọtụtụ ihe a mara maka ha. Ọmụmaatụ agwa ndakpu gụnyere, Afọma, uchegbu, Nwankwọ na Ugomma n’akwụkwọ ejije *Ifeatụ*.

**iii. Ọdịdị agwa Ikeokwu (2008)**

Ikeokwu (2008) tụpụtara ọdịdị agwa atọ. Ha bụ:

1. **Agwa ọchịchọ ọhanaeze** (Idealist characters): Agwa ọchịchọ ọhanaeze bụ agwa ndị ahụ omume na emereme ha niile bụ maka ọdị mma ndị ọzọ. Ụdị agwa a anaghị etinye aka n’ihe ọjọọ. Ọ naghịkwa ada maọbụ enupu isi n’iwu obodo. Ha nwere ike ịnata mmekpa ahụ dị iche iche iji hụ na ha emegideghị iwu ọhaneze. Nke a pụtara na ọnọdụ maọbụ etu ihe si kwuru anaghị eme ka agwa ọchịchọ nke ọhaneze gbanwee akparamagwa ya. Ọmụmaatụ gụnyere

2. **Agwa ọchịchọ onwe** (Realist characters): Agwa ọchịchọ nke onwe bụ agwa ndị ahụ na-achọ naanị odịmma nke ha. Ha dị njikere imesi mmadụ ibe ha ike maọbụ nupu isi n’iwu obodo iji hụ na ha nwetere ọchịchọ obi ha. Ụdị agwa a anaghị enwe mgbanwe n’akparamagwa ya. Mgbanwe ọbụla a hụtara na-abụkarị nke aghụghọ, e mechaa ha na-alọghachi azụ n’omume ha. Ọmụmaatụ

3. **Agwa nnọnetiti** (Centrist characters): Agwa nnọnetiti bụ agwa ndị ahụ na-achọ ọdị mma nke ha nakwa nke ndị ọzọ. Ha nwere ike itinye aka n’ihe ọjọo maọbụ nnupu isi n’iwu obodo ka ha wee zọọ isi onwe ha mana n’ikpeazụ ha na-emezi ihe ha mebiri maọbụ rịọ mgbaghara. Ọmụmaatụ

**3.1.3 Usoro nzipụta akparamagwa dị iche iche** (Nkọwa na Ngosi (showing and telling)

E nwere usoro dị iche iche ndị odee si eme ka ndị ọgụụ maọbụ ndị nkiri mata akparamagwa maọbụ omume agwa dị iche iche. Etu e si zipụta agwa ga-ekwu ụdị mmetụtaobi ndị ọgụụ maọbụ ndị nkiri ga-enwe n’ebe agwa nke ọbụla dị. Ya mere o ji dị nnukwu mkpa na ndị odee ga-ezipụta agwa nke ọma. Usoro e si ezipụta akparamagwa gbara ụzọ abụọ dị ọkpụrụkpụ - ngosi na nkọwa (showing and telling).

**Ngosi (showing)**: N’usoro a, a anaghị aga n’ihu kọwara ọgụụ akparamagwa agwa ọbụla kpọmkwem kama,a na-ahapụ ọgụụ ka o jiri aka ya mata agwa nke ọbụla. E nwere ụzọ isii e si egosipụta akparamagwa, ha bụ:

**Ọdịdị agwa**: A na-esite n'etu agwa dị n'anya wee zipụta akparamagwa ya. Ọdịdị agwa gụnyere nhatanha ya ya bụ, ma o toro ogologo maọbụ ọ dị mkpụmkpụ; ụcha anụ ahụ ya ya bụ, ma ọ dị ọcha maọbụ oji tinyere ejiji na etemete ya. Site n'ejiji na etemete agwa, e nwere ike ịmata ọrụ agwa dịka maọbụ dinta, dimgba, dibia maọbụ injinia. E wekwara ike ịmata ma agwa abụ ogbenye maọbụ ọgaranya.

**Mmekọrịta agwa na agwa ndị ọzọ**: A na-esite n'etu agwa na agwa ndị ọzọ si emekọrịta, ezipụta akparamagwa. A na-amata omume agwa site n'etu o si emeso ndị ọzọ omume nakwa etu ndị ọzọ si emeso ya omume. Site na mmekọrịta agwa na agwa, ọgụụ maọbụ onye nkiri were ike ịmata akparamagwa agwa dịka ịmata ma ọ bụ onye iwe ọkụ, onye anya ukwu, onye obi ebere dgz. Ọ bụrụ na ọ bụ isite na mmehere ahụ, emereme, nhọokwu nakwa olu agwa wee mata akparamagwa ya.

**Emereme**: Emereme gụnyere ihe agwa mere nakwa etu o si mee ihe ahụ n'ọnọdụ ọbụla. Site n'emereme agwa, a na-amata akparamagwa ya. Agwa nwere ike chee  maọbụ kwuo otu ihe ma mee ya maọbụ mee ihe ọzọ. Etu agwa si emeghere akụkụ ahụ ya mgbe ọ na-emepụta emereme na-agbakwa ama akparamagwa ya. Mmeghere akụkụ ahụ gụnyere etu agwa si aga ije, etu o si edowe ihu ya dgz.

**Okwu ọnụ**: A na-esite n'okwu ọnụ agwa were mata akparamagwa ya. Okwu gụnyere ihe e kwuru nakwa etu e siri kwuo ya. E nwere ike isite n'akụkụ abụọ leruo okwu agwa anya. Akụkụ abụọ ndị ahụ bụ nhọokwu na olu. Nhọokwu bụ ụdịdị mkpụrụokwu agwa na-eji akparịta ụka ebe olu bụ etu agwa si edewe olu ya mgbe ọ na-ekwu okwu. Site na nhọokwu, a na-amata ihe dịka ma agwa agara akwụkwọ maọbụ ọ gaghị, ọ bụ onye amamiihe maọbụ onye nzuzu dgz. A na-esitekwa na ndebeolu maobụ ngweolu agwa nwere mata ma agwa a na-ewe iwe ọkụ, eme ihere dgz.

**Echiche**: A na-esite n'etu agwa si eche echiche amata akparamagwa ya. Echiche bụ mkparịtaụka mmadụ kpasoro onwe ya. N'ihi na ọ bụ ihe na-eme n'uche mmadụ, ọbụghị oge niile ka a na-amata mbunuche agwa. N'ejije a na-esite na nkwuuruonwe (soliloquy) amata echiche agwa. N'agbanyeghị nke a, ọbụghị n'ejije niile ka a na-enwe nkwuruuonwe. A na-sitekwa na mkpalị mmuọ (motive) agwa, amata echiche agwa. Mmkpali mmụọ bụ ihe ahụ na-akwanye agwa ime ihe. Nke a pụtara na site n'ileru anya n'emereme agwa, e nwere ike ịchọpụta mmkpali mmụo ya ma mata echiche ya.

**Aha**: Ọtụtụ oge, aha agwa na-agba ama akparamagwa ya. Ọmụmaatụ,

**2. Nkọwa**: nke a bụ odee iji aka ya kọwaa akparamagwa agwa. Odee na-atọrọ ọgụụ ntọala agwa. A na-emekarị nke a site n'ịga n'ihu kọwaa akparamagwa agwa n'uju dịka ikwu etu o si dị ya bụ ikwu ma o buru ibu, ọ tara ahụ, o toro ogologo maọbụ ọ dị mkpụmkpụ. A ga-akọwakwa ụcha ahụ ya nakwa ụcha isi ya tinyere ụdị ejiji agwa na-ejikarị na etu o si aga ije. A na-akọwakwa mbunuche maọbụ echiche agwa.

Usoro ngosi na-adị ire mgbe a na-egosipụta ejije egosipụta ebe usoro nkọwa na-adị ire oge a na-agụ ejije agụ.

**Nnwale onwe 1**

1. Kọwaa ndịiche dị n'etiti agwa na akparamagwa

2. Depụta ma kọwaa ụdị agwa ise ị maara

3. Olee ụzọ anọ e nwere ike isi zipụta akparamagwa?

4. Kọwaa n'uju, ọdịdị agwa atọ ị maara

**3.2. Nhazi akụkọ (plot)**

Ejije ọbụla ga-enwerịrị usoro emereme a haziri nke ọma. Nhazi akụkọ bụ usoro doro anya e si hazie emereme dị n'ejije. N'agbanyeghị na a na-egosipụta ejije egosipụta, ejije ọbụla nwere akụkọ a na-akọ na ya. Nhazi n'ejije bụ usoro e si hazie akụkọ a na-egosipụta. Ọ dị mkpa ka arụtụ aka na ndịiche dị n'etiti akụkọ (story) na nhazị akụkọ (plot). Akụkọ bụ arọrarọ ebe nhazi akụkọ bụ etu e si rọọ akụkọ iji zipụta n'uju. Emereme na-enweghị ezi nhazi abụghị ejije. Nke a pụtara na tupu a si na emereme maọbụ ihe ngosipụta ọbụla bụ ejije, ọ ga-agbaso ezi usoro. N'otu aka ahụ, emereme niile dị n'ejije ga-enwe ihe jikoro ha. Nke a pụtara na otu emereme ga-ebute emereme ọzọ. Ejije na-enwekarị ọkpụrụkpụ nhazi akụkọ (main plot) na mgbakwunye nhazi akụkọ (sub plot). Ọkpụrụkpụ nhazi akụkọ bụ usoro nzipụta isi emereme maọbụ ọkpụrụkpụ akụkọ dị n'ejije ebe mgbakwunye nhazi akụkọ bụ ụmụ irighiri akụkọ maọbụ emereme ndị e ji kwado maọbụ mejupụta isi emereme maọbụ akụkọ. ọmụmaatụ, n'

### 3.2.1 Mmebere nhazi akụkọ (Elements of plot)

N'ihazi emereme dị n'ejije, ọ dị ihe ndị ga-apụtarịrị ihe. Ihe ndị ahụ bụ mmebere nhazi akụkọ. ha gụnyere:

**Ndọrọndọrọ (conflict/crisis)**: ndọrọndọrọ bụ ndọghasi dị n'etiti ikike abụọ maọbụ karịa n'ejije. Ọ bụ isi sekpu nti na nhazi akụkọ ejije ọbụla n'ihi na e wepu ndọrọndọrọ, emereme dị n'ejije agaghị enwe ebe mgbakwasị ụkwụ. E were ụdị ndọrọndọrọ abụọ; ndọrọndọrọ keonwe (intra-conflict) na ndọrọndọrọ keọha (inter-conflict). Ndọrọndọrọ keonwe bụ ndọrọndọrọ otu agwa na-enwe n'ime ọnwe ya. Ụdị ndọrọndọrọ a na-abụkarị nke akọnuche. Ndọrọndọrọ keọha bụ nke na-adị n'etiti otu agwa na agwa ọzọ maọbụ karịa

**Mkpughe (Exposition)**: Nke a bụ otu mmebere nhazi akụkọ nke na-ebute ụzọ. Ọ bụ n'ebe a ka ndị nkiri maọbụ ọgụụ ga-amata agwa ndị so n'akụkọ, akparamagwa ha nakwa ndọrọndọrọ (crisis) nke ejije ahụ hiwere isi na ya. Mkpughe bụ ebe a na-edubanye ndị nkiri maọbụ ọgụụ n'emereme dị n'ejije site n'ịtọ ntọala akụkọ a na-egosipụta. Mkpughe dị nnukwu mkpa na nhazi akụkọ n'ihi na e wepu ya, ndị nkiri nakwa ọgụụ agaghị aghọta ejije a na-ekiri maọbụ agụ. E nwere ụzọ atọ e nwere ike isite na ya dubanye ndị nkiri na ọgụụ n'ejije. Ha bụ (i) ọkọọ (narrator) inye nkọwa banyere agwa na ọnọdụ ya na mbido ihe nkiri ọbụla (ii) Ncheta (flash back)- nke a bụ ịkọwa ihe ndị merela tupu a doghee akwa mgbochi (iii) nrutu aka n'ihe ga-eme n'ọdịniihụ (foreshadowing).

**Nrigo emereme (Rising action)** Nke a na-esote mkpughe. Ọ gụnyere emereme niile bịara tupu nrielu ndọrọndọrọ. N'ebe a, a na-ezipụta ndọrọndọrọ ejije hiwere isi na ya nke ọma. Na mkpughe, a na-arutu aka n'ihe na-ebute ndọrọndọrọ ma na nrigo emereme, a na-ezipụta ihe agwa dị iche iche tụmadị isiagwa na ndọrọ isiagwa, mere banyere ndọrọndọrọ e nwere nakwa ihe emereme ha butere. Na nrigo emereme, a na-enwe ajụjụ ejije (dramatic question). Ajụjụ ejije bụ ajụjụ ndị nkiri maọbụ ọgụụ na-ajụ onwe ha banyere ihe ọzọ nwere ike ime dịka ndọrọndọrọ na-aga n'ihu. A na-enwe ọtụtụ ajụjụ ejije n'ejije ọbụla e dere maọbụ gosiputara nke ọma. Ajụjụ ejije na-eme ka ndị nkiri maọbụ ọgụu tinye uche n'emereme ejije.

**Nrielu ndọrọndọrọ (climax)**. N'ebe a ka ndọrọndọrọ kacha rigoo elu. Etu e si amata nrielu ndọrọndọrọ n'ejije ọbụla bụ na obi na-eko ndị nkiri maọbụ ọgụụ n'elu n'ihi na a maghị ihe ga-eme. Na nrịelu ndọrọndọrọ ka a na-enwete ajụjụ ejije ikpeazụ.

**Nrịda emereme (falling action)** nke a na-abịa ozigbo e nwechara nrielu ndọrọndọrọ. Ọ gụnyere emereme niile biara ka e nwechara nrielu ndọrọndọrọ. N'ebe a ka a na-amata njedebe ndọrọndọrọ ejije. A na-amata onye meriri nakwa onye e meriri. Obi ndị nkiri nakwa ọgụụ na-ezidata. A naghị enwe ajụjụ ejije ebe a.

**Mkpebi na mmechi (resolution and denouement)**: nke a so na nrịda emereme. Ọ bụ ebe a na-eweta emereme dị n'ejije n'isi njedebe. Na mkpebi (resolution) ka a na-anọ na ya, zaa ajụjụ ejije ikpeazụ kpọmkwem. Ihe ndị ọzọ niile mere ka e nwechara mkpebi ka a na-akpọ mmechi. Imaatụ, (denouement)

**Ịdị n'otu oge, ebe na emereme (Unity of time, place and action)**: Ọ bụ Arịstọtụl tupụtara echiche a nke na-ekwu na emereme, oge na ebe mmepụta ejije ga-adakọrịta ọnụ ma bụrụ otu. A na-ahazi ejije n'ụdị na otu emereme ga-akpata emereme ọzọ. nke a pụtara na emereme niile ga-enwe ihe jikọrọ ha, ọ gaghị abụ ewetaetịị. N'otu aka ahụ, a ga-emepụta emereme niile dị n'ejije n'otu oge nke agaghị akarị otu ụbọchị (awa iri abụọ na anọ) tinyere na a ga-emepụta ihe ngosi niile n'otu ebe. Ọ bụrụ na emereme ejikọtaghị ọnụ, oge ngosipụta karịrị otu ụbọchị maọbụ na a nọghị otu ebe nakwa n'otu oge gosipụta emereme, a mara na a hazighị ejije nke ọma.

### 3.2.2 Ọdịdị nhazị akụkọ (Plot structure)

**Ke Aristọtụl**: Aristọtụl tụpụtara ọdịdị nhazi akụkọ na-agbaso n'ejije. N'uche ya, ejije ọbụla na-enwe mbido (beginning), etiti (middle) na ngwụcha (end). Ọdịdị nhazi ke Aristọtụl ka a na-akpọ trayangul. Na ọdịdị nke Aristọtụl, mbido na ngwụcha emereme na ha nhatanha, onweghị nke na-aka ibe ya

**Ke Freytag:** Gustav Freytag tụpụtara ọdịdị nhazi akụkọ ejije na-agbasokarị nke nwere mmebere asaa. Mmebere asaa ndị ahụ gụnyere: mkpughe (exposition), emereme mkpatara (inciting incident), nrịgo emereme (rising action), nrịelu emereme (climax), nrida emereme (falling action) mkpebi (resolution) na mmechi (denouement). A na-akpọ ọdịdị ke Freytag piramidi n'ihi na ọ bụ n'ukwu trayangul ka emereme kacha baa ụba.

**Ke Rowe**: Kenneth Thrope Rowe n'afọ 1939, tụpụtara odịdị nhazi akụkọ o chere na ejije na-agbaso. N'uche ya, emereme ndị mejuputara nrigo emereme na-aka ndị mejuputara nrịda emereme.N'eserese nke Rowe, akụkụ aka ekpe trayangụl na-aka akụkụ aka nrị. Nke a pụtara na trayangụl ahaghị nhatanha.

**Ke Frye**: Northrop Frye tụpụtara ọdịdị nhazi akụkọ abụọ, otu maka ejije mkpaobiọma, nke ọzọ maka ejije ọdachị. N'uche ya, nhazi akụkọ ejije mkpaobioma na-agbaso ọdịdị mkpụrụedemede 'U' ebe nke ejije ọdachi na-agbaso ọdịdị mkpụrụedemede 'n' maọbụ'u' a kpodoro isi n'ala. O ji akụkọ dị n'akwụkwọ nsọ wee zipụta na a na-enwe tụgharị n'ọnọdụ site na mma gbadaa na njọ ma rịgotakwa na mma n'ejije mkpaobiọma. Ya mere o ji jiri mkpụrụedemede 'u' wee zipụta ya. N'aka nke ọzọ, ọnọdụ isiagwa na-esite n'ebe dị mma gbadaa n'ebe dị njọ ma nọgide etu ahụ n'ejije ọdachi. Nke a mere o ji jiri 'n' maọbụ 'u' a kpodoro isi n'ala wee ziputa ya.

### 3.2.3 Ụdị nhazi akụkọ dị iche iche

**a. Kengawanye (progressive plot)**: dịka aha ya siri dị, nke a bụ ụdị nhazi akụkọ nke akụkọ na amalite na mbido, gaa n'etiti wee rute na ngwụcha. Akụkọ na-enwe otu eriri jikọrọ emereme niile. Otu emereme na-akpalite maọbụ ebute emereme ọzọ n'usoro doro anya.

b. **Ke ewetaetii (episodic plot)**: Nke a bụ ụdị nhazi akụkọ nke a na- enwe karịa otu akụkọ n'ime ya mana akụkọ niile na-enwe otu eriri jikọrọ ha. A na-enwe isi akụkọ na mgbakwunye. Etu e si amata nke bụ mgbakwunye akụkọ bụ na-ewepụ ya, isi akụkọ ga-akwudo ma nwee nghọta zuru oke. Mgbakwunye akụkọ na-enyere aka ịgbatị akụkọ dị n'ejije.

ch. **Ke nkwuruonwe (parallel plot)**: N'ụdị nhazi akụkọ a, a na-enwe karịa akụkọ abụọ. Akụkọ nke ọbụla na-enwe eriri akụkọ nke ya. Akụkọ nke ọbụla na-enwe isiagwa nke ya. Na ngwụcha, a na-ekpokota akụkọ ndị ahụ niile ọnụ. Isiagwa n'akụkọ nke ọbụla na-enwe njedebe nke ya.

d. **Ke ncheta (flash back plot)**: Nke a bụ ụdị nhazi akụkọ nke emereme na-ebido n'etiti maọbụ na ngwụcha. Nke a pụtara n'akụkọ anaghị ebido n'isi. A na-enwe agaa ihu, a gaa azụ n'usoro nhazi akụkọ a. A na-ebu ụzọ ezipụta emereme tupu e ziputa ihe kpatara emereme ahụ maọbụ mbunuche agwa. Emereme gbasoro ụdị nhazi a, bụ nke otu eriri akụkọ jikọrọ kama anaghị ezipụta maọbụ akọpụta ha n'usoro ha si wee mee.

e. **Ke etiti (concentric plot)**: Nke a bụ nhazi akụkọ nke a na-ezipụta naanị emereme, echiche na nkwenye isiagwa. A naghị etinye anya n'agwa ndị ọzọ. Emereme niile mejuputara ejije maobụ akụkọ na-agba isiagwa okirikiri. Usoro nhazi ke etiti na nke ngawanye na eyitu mana ndịiche dị n'etiti ha abụọ bụ na nke ngawanye, a na-enwe emume maọbụ ihe nkiri nke isiagwa agaghị apụta na ya mana na nke etiti, isiagwa ga-apụta n'emume nakwa ihe nkiri niile.

**Nnwale onwe 2**

1. Gịnị bụ nhazị akụkọ?

2. Depụta ma kọwaa mmebere nhazi akụkọ ise.

3. Depụta ọdịdị nhazi akụkọ atọ.

4. Kedụ ndịiche n’etiti nhazi akụkọ Freytag na Frye?

5. Kọwaa ụdị nhazi akụkọ anọ ị maara.

**3.3 Asụsụ**

Asụsụ so n’otu njirimara na-ekewapu otu ngalaba agụmagụ na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ. ngalaba agụmagụ ọbụla nwere ụdị asụsụ ọ na-anabata. Ejije nwere usoro pụrụ iche e si eji asụsụ arụ ọru na ndepụta nakwa na ngosipụta ya. N’asụsụ, e nwere mkparịtaụka, nhọokwu na olu

**3.3.1 Mkparịtaụka (Dialogue)**

Ejije bụ ngalaba agụmagụ a na-edepụta n’ụdị mkparịtaụka. Ọ na-adị n’ụdị otu agwa kwuo, agwa ọzọ maọbụ ndị ọzọ asaa ya. Nke a pụtara na n’ejije, a na-ahazi asụsụ n’ụdị mkparịtauka. Ịmaatụ

Okeke: Ugodiya! Ugodiya!

Ugodiya: Nna anyị!

Na mkparịtaụka, a na-esite n’ọnụ agwa kpọmkwem mata mbunuche ya nakwa mkpatara mbunuche ya. A naghị esite n’ọnụ otu agwa maọbụ ọkọọ amata ihe mere. Ya mere na e nweghị nkesirihụ maọbụ kesirikọo (narrative perspectives or points of view) n’ejije. Ọ bụ n’ihi na agwa ọbụla na-eji aka ya azara ọnụ ya n’ejije mere e ji ahụta ejije dịka ngalaba agụmagụ kacha ezipụta ndụ na obibi ya.

**3.3.2 Nhọokwu (Diction)**

Site n’ụdị asụsụ agwa ji akaparịtaụka, ọgụụ maọbụ ndị nkiri ga-amata akparamagwa ya. Nhọokwu bụ mkpụrụokwu nakwa ahịrịokwu ndị agwa ji akparịta ụka. Nhọokwu agwa na-agba ama ụfọdụ ihe dịka ogo agụmakwụkwọ agwa, ekpemekpe na ogo agwa n’ọhaobodo.

### 3.3.3 Olu (Tone)

Olu bụ etu agwa si welie maọbụ wedaa olu ya oge ya na agwa ndị ọzọ na-akparịta ụka were ike inwe olu ike, olu nwayọọ. O wekwara ike iji olu mba maọbụ olu ọma wee kparịta ụka. Site n'olu agwa, e nwere ike ịmata ụfọdụ ihe dịka afọ ole agwa dị, mmetụtaobi agwa na-enwe dịka iwe, aṅụrị, mwute, egwu maọbụ ụjọ dgz.

**Nnwale onwe 3**

1. Kedụ ọrụ asụsụ na ndepụta ejije?

2. Kedụ ọrụ asụsụ na ngosipụta ejije?

### 3.4 Nṅomi na njije (impersonation and imitation)

Nṅomi bụ mmadụ iyi awọrọ onye maọbụ ihe ọzọ ma nwere ọnọdụ ka onye maọbụ ihe ahụ. N'ejije, mmadụ nwere ike iṅomi agwa mmadụ, anụmanụ maọbụ mmụọ. N'aka nke ọzọ, njije bụ mmadụ ijije akparamagwa agwa ọzọ. Nṅomi na njije na-agakọrita ọnụ, ma ha abụghị otu. A na-eṅomi agwa ebe a na-ejije akparamagwa. Ịmaatụ, nwa akwụkwọ so n'ejije nwere ike iṅomi agwa onye nkuzi, onye isi mahadum dgz, site n'ijije akparamagwa ha. Nke a pụtara na e nweghị ike inwe nṅomi ma ọ bụrụ na e nweghị njije mana e nwere ike inwe njije na-enweghị nṅomi. Ịmaatụ, Nwa akwụkwọ nwere ike ijije akparamagwa onye nkuzi ya n'enweghị ọnọdụ ya. Kaosiladị, tupu a kpọọ agụmagụ maọbụ ihe ngosi ọbụla ejije, a ga-enwerịrị nṅomi na njije. Na ndụ, iṅomi agwa ya bụ, i nwere ọnọdụ onye maọbụ ihe ọzọ mmadụ abụghị, dị n'iwu mana ijije akparamagwa mmadụ adịghị n'iwu. Ọ bụ naanị n'ejije ka nṅomi adịghị n'iwu n'ihi na e wepu nṅomi, a gaghị enwe ejije.

**Nnwale onwe 4**

1. Kọwaa nṅomi

2. Kọwaa njije

3. Kedụ ndịiche dị n'etiti nṅomi na njije?

4. Kedụ myiri dị n'etiti nṅomi na njije?

### 3.5 Nkwagọ

Nkwago gụnyere ebe niile a nọ egosipụta ejije nakwa ihe niile a na-ahụ maọbụ eme ebe ahụ. Ọ bụ ebe agwa ndị so n'ejije na-anọ egosiputa ndị nkiri emereme ha. Naanị agwa ndị so n'ejije ka a na-ahụ n'elu nkwago; ndị nkiri na ndị na-enyere aka na mmepụta ejije anaghị apụta maobụ anọ n'elu nkwago. E nwere ụdị nkwago dị iche iche nakwa ihedị iche iche a na-ahụta n'elu nkwago

### 3.5.1 Arịa (Props)

Arịa gụnyere ihe niile na-enweghị ndụ nọ n'elu nkwago dịka oche, azịza, ọjị na ọkwa ọjị, nrị dị iche iche dgz. E kewara arịa ụzọ abụọ - ndị nwere ọdịmara (symbolic props) na ndị enweghị ọdịmara (non-symbolic props). Arịa ndị nwere ọdịmara bụ ndị ahụ na-anochite anya onwe ha nakwa anya ihe ọzọ. Ọmụmaatụ, ọji na-anọchite anya onwe ya dịka erimeri ma na-eziputakwa nnabata na ịdị n'otu. Arịa ọdịmara na-enwe mpụtara abụọ maọbụ karịa. Arịa ndị na-enweghị ọdịmara bụ arịa ndị ahụ nwere naanị otu mpụtara. Ha na-anọchị naanị anya onwe ha. Ọtụtụ oge, aria na-enwe karia otu mpụtara, nwata akwụkwọ kwesiri ichemi echiche ime iji chọpụta mpụtara ọzọ arịa e ji mepụta ejije nwere.

### 3.5.2 Ekike/ejiji (Costumes)

Ekike maọbu ejije gụnyere ihe niile agwa yikwasa n'ahụ dịka akwa/uwe, jigida, mgba aka, mgba olu, mgba ụkwụ dgz. Ekike dị nnukwu mkpa n'ejije. Ekike na-ezipụta akparamagwa site n'ịgba ama ọrụ aka na ọnọdụ agwa. Ọmụmaatụ site n'ekike, e nwere ike ịmata ma agwa abụ dibia, dọkịnta, nọọsụ, mmọnwụ, onye ichie, igwe, ọgaranya, ogbenye, onye ara, dgz. Ọtutụ oge, ekike agwa na-agba ama akparamagwa ya tupu a lụ olu agwa ahụ. Ekike agwa na-abụkarị ọdịmara n'ihi na ọ na-agba ama ọnọdụ maobụ ogo agwa.

### 3.5.3 Etemete (Make-up)

Etemete gụnyere ihe niile a kara agwa n'ahụ dịka uri anya, uri ọnụ nakwa akara dị iche iche. Ọrụ etemete na ngosipụa ejije gụnyere ime ka agwa maa mma maọbụ jọo njọ, ime ka agwa sonye n'agbata afọ dịka okenye, ntorobia na nwata. Etemete na ejije kwesiri ịdakọrita. Site n'etemete, a na-ezipụta ntọala oge, akụkọala na gburugburu

### 3.5.4 Ụcha ọkụ latriki (Lighting)

Ụcha ọkụ latriki bụ ụzọ niile e siri chakee ọkụ n’elu nkwago oge a na-egosipụta ejije. E nwere ike izipụta, oge dịka ụtụtụ, ehihie na abali; ịhụ igwe dịka mmiri ozuzo na anwụ okike. Nke a pụtara na a na-esite n’ụcha ọkụ latriki gosipụta ntọala ebe, oge, na ihu igwe.

**3.6 Ntọala (Setting)**

Ntọala gụnyere ebe niile nakwa agbata oge e ji gosipụta emereme niile n’ejije. Ntọala dị nnukwu mkpa n’ejije n’ihi na ọ na-enyere aka eme ka ọgụụ maọbụ ndị nkiri ghọta emereme dị n’ejije nke ọma. Ọ dị ihe ise mejuputara ntọala agụmagụ ọbụla.

**3.6.1 Mmebere ntọala (Elements)**

**3.6.1.1 Ebe (Geographical location)**

Ebe bụ ebe niile a nọ mepụta emereme dịka obodo, ụlọ, ahịa, okporo ụzo, ime ọhịa, ama, n’ime mmiri, ụlọọrụ, n’elu oche, n’okpuru uko dgz. Ọmụmaatụ, na *Nkemjika*, ụlọ ụka, ụlọ eze na ime ọhia bụcha ebe a nọ mepụta emereme dị iche iche.

**Oge (Time)**

Oge gụnyere, elekere, awa, izuuka, ụtụtụ, isi ụtutụ, ehihie, abalị, n’etiti abalị, ụbọchị n’izuụka (mondee, tuzdee dgz) ụbọchị ahịa (Eke, Orie, Afọ, Nkwọ) na afọ akụkọ dị n’ejije mere. Ọmụmaatụ, na *Nkemjika*, oge emereme dị n’ejije ahụ mere bụ tupu ndị ọcha na ụka abata ala Igbo.Ọ bụrụ emereme mereela oge dị anya, a na-eji okwu dịka ‘mgbe ezi dị n’ukwu ụkwa’ maọbụ ‘mgbe elu bụ ala ọsọ’ ezipụta oge. Ịmaatụ, n’Ọjaadiịlị, oge emereme dị n’ejije ji mee bụ oge chukwu na-eke ụwa. Ntọala oge na-enyere ndị nkiri maọbụ aka ịghọta ihe kpatara ụfọdụ emereme ji pụta ihe n’ejije nakwa ihe mere agwa ji tee ụdị etemete ha tere, jie ụdị ejiji ha jiri maọbụ asụ ụdị asụsụ ha na-asụ.

**3.6.3 Ntọala ihu igwe (Weather)**

Ntọala ihu igwe bụ etu igwe siri dowe ihu oge emereme na-aga n’ihu. ọnọdụ ihu igwe gụnyere udummiri, mmiri ozizo, ọkọchị, anwụ okike, ikuku, oyi, okpofu dgz. Etu igwe si dowe ihu na-emetụta ọnọdụagwa na akparamagwa ya.

**3.6.4 Ntọala omenaala (Cultural setting)**

Ịghọta omenaala ejije hiwere isi na ya na-enyere aka ịghọta emereme dị n’ejije. Omenaala bụ mkpokota echiche, nkwenye na usoro ndị si ebi ndụ ha. Iji ghọta ihe mere e ji anabata emereme ụfọdụ ma jụ ndị ọzọ nakwa akparamagwa agwa ọbụla n’ọnọdụ ọbụla, ndị nkirị na ọgụụ kwesiri ịmata omenaala ejije gbadoro ụkwụ na ya. Ntọala omenaala na-enyekwara aka iziputa mpụtara emereme dị n’ejije. Ịmaatụ, ntọala omenaala Igbo ga-enyere ndị nkiri aka ighota mpụtara ịwa ọjị na ike ọmụ nkwụ.

### 3.6.5 Ntọala gburugburu (Social setting)

Ịmata ihe na-ewu oge edepụtara maọbụ emepụtara ejije ga-enyere ndị ọgụụ na ndị nkiri aka ịghọtawanye emereme dị n’ejije nakwa akparamagwa agwa dị iche iche. Na gburugburu nakwa n’oge ọbụla, o nwere ihe ndị na-ewu dịka ejiji, etemete, asụsụ, usoro mmemme dgz. Ihe ndị ahụ na-ewu oge a na-edepụta ọrụ agụmagụ na-apụta ihe n’orụ agụmagụ ahụ. N’ihi ya, ọ dị mkpa na a ga-atọ ntọala gburugburu ejije nke ọma ka nghọta ndịna ya wee bawanye.

## 3.7 Mkpatara (Motive)

Mkpatara bụ ihe na-akwanye agwa n’ụdị akparamagwa ọ na-akpa. Iji mee ka emereme agwa chịkọọ ọnụ ma gbasoo usoro doro anya, a ga-enwe ihe kwu emereme ya n’azụ. Mkpatara n’ejije nwere ike ịbụ ịhụnanya, nganga/mpako, ọbọ, mkpa dgz. Imaatụ, emereme Eze onyekwere na Nkemjika bụ mkpa kpatara ya. Mkpa nwa nwoke mere o jiri lụta nwunye nke abụọ. Ọ bụkwa n’ihi na nwunye ya nke mbu amụtaghị nwa nwoke mere o ji emesi ya ike. N’otu aka ahụ, mpako tinyere Ọjaadili n’ịgba mgba n’ala mmadụ, mmuọ na anụmanụ. Ọ bụ ọchịchọ ya nke bụ ka ọ bụrụ onye mbụ luru ọgụ n’ala atọ na-achịkwa emereme ya niile.

## 3.8 Emereme (Action)

Emereme bụ otu n’ime ndị a na-agụnye dịka isi sekpu nti n’ejije. Emereme gụnyere ọkwu ọnụ na mmeghari akụkụ ahụ dị iche iche agwa ndị so n’ejije. Ọ bụ site n’emereme ka e si ezipụta akụkọ ejije, akparamagwa nakwa mkpatara akparamagwa agwa dị iche iche. Ma emereme adịghị, a gaghị enwe ejije. Ọ bụ emereme kewapụtara ejije na ngalaba agụmagụ ndị ọzọ. Ọ bụ naanị n’ejije ka agwa na-ekwuchitere onwe ya site n’emereme ya. N’akụkọ na abụ, ọkọ akụkọ na-ekwuchite ọnụ agwa ọbụla. A kọwara na nṅomi na njije bụ njirimara ejije kacha gbaa ọkpụrụkpụ, ọ bụ site n’emereme ka e si ezipụta nṅomi na njije.

### 3.9 Akụkọ (Story)

Ejije ọbụla na-enwe akụkọ a na-ezipụta na ya.  Akụkọ bụ nchịkọta emereme niile dị n'ejije. Ịmaatụ, akụkọ dị na *Nwaanyị Bụ Ife* bụ na otu dị na nwunye mụtara naanị ụmụ nwaanyị. Nwanne nke nwoke na nwunye ya mụtara ma nwoke ma nwaanyị n'ihi ya, ha na-amụ di na nwunye ahụ amụ. Dị na nwunye ahụ gbara aka mmiri zụọ ụmụ ha nke ọma ha wee bụrụ mmadụ ebe ụmụ nwunye dị nke nwaanyị lara n'iyi. Ọ dị mkpa ịkọwa na akụkọ dịwaga iche na nhazi akụkọ. Akukọ bụ nchịkọta emereme ebe nhazi bụ usoro emereme gbasoro wee mee.

### 3.10 Nkobielu (Suspense)

Ime ka obi ndị nkiri kọrọ n'elu oge ha na-ekiri ihe ngosipụta bụ otu n'ime njirimara ejije. Nkobielu na-abịa oge ndị nkiri na-achọ ịma ihe ga-eme tụmadị mgbe ndọrọndọrọ rịrị elu. Nkobielu na-apụta ihe mgbe emereme na-arị elu. Obi ndị nkiri na-ezidata na nrịda emereme. Nkobielu na-eme ka ike ghara ịgwụ ndị nkiri mgbe ha na-ekiri maọbụ agụ ejije. Ọ na-enyekwara ike ịkụpụta mmetụtaobi n'ime ndị nkiri.

### 3.11 Nkụpụta mmetụtaobị (Purgation of emotions)

Ejije na-akụpụta mmetụtaobi n'ime ndị nkiri. Aristọtụl kọwara na ndị nkiri kwesiri inwe metụtaobi mwute na egwu tụmadị oge ha na-ekiri ejije ọdachi. Mmetụtaobi ejije na-akụpụta n'ime ndị nkiri gụnyere aṅurị, iwe, mwute na egwu. Mmetụtaobi ndị nkiri na-enwe, na-eme ka ha chemie echiche ime ma mụta ihe.

### 3.12 Egwu/Ụda (Music/Sounds)

Egwu bụ mmebere dị mkpa na mmepụta ejije. Egwu bụ ụda a haziri n'usoro nke na-atọ ụtọ na ntị. Mkpatụ ọbụla na-agbasoghị usoro abụghị egwu kama, ọ bụ mkpọtu. Ụda a hiziri nke ọma ma na-ekwepụta ya ekwepụta bụ egwu. Mkpatụ ndị ọzọ nwere usoro nakwa ndanusoro bụ ụda. E were ike iji olu maọbụ e jiri ngwa egwu dị iche iche dịka ụbọ, ọja, ekwe, ogene, udu na ịgba, were mepụta ụda n'ejije. Egwu na-enyere aka ezipụta ọnọdụ na mmetụtaobi n'ejije. Egwu ndanusoro ya na-aga nwayọọ nwayọọ na-ezipụtakarị mwute na egwu ebe ndị ndanusoro ha na-aga ọsọọsọ na-ezipụtakarị aṅụrị na iwe.

### 3.13 Nkwekọrịta ndị omee na ndị nkiri (Dramatic conventions)

E nwere ọtụtụ emereme nke na-ahịa ahụ maọbụ nke e nweghị ike impepụta n'elu nkwago. Nkwekọrịta ndị omee na ndị nkiri bụ iwu ndị ahụ jikọtara ndị nkiri na ndị omee na mmepụta ejije. Nkwekọrịta ndị ahụ gụnyere:

**i) Nkwụsị ekweghị ekwe (suspension of disbelief)**

Ndị nkiri kwesiri ịnabata ihe ndị ha mara na o kweghị omume na ndụ nke na-apụta ihe n'ejije dịka otu nkwago ịbụ ntọala ebe niile e mepụtara emeremen'ejije dịka ahịa, ụzọ, ọhịa dgz; Nzipụta ihe mere n'ọtụtụ afọ n'otu awa maọbụ awa abụọ dịka nwatakịrị itopụta. Ịmaatụ, na *Nwata Rie Awọ*, Ọdịnchefu topụtara agbọghọ nna ya wee lụọ ya. Ọzọ, ọtụtụ afọ gara bido mgbe Aworo refuru nwunye ya na nwa ya rue mgbe ọ lụrụ nwa ya. Mana e zipụtara emereme ndị a n'ime awa abụọ.

**ii) Ọkọ akụkọ (Narrator)**

E nwere emereme ndị na-ahia ahụ nzipụta n'elu nkwago dịka ife n'ụgbọ elu na igu mmiri, ọkọ akụkọ na-ekwu ihe ndị ahụ n'ọnụ maọbụ o jiri eserese zipụta ya. Ndị nkiri ga-aghọta nhịahụ dị n'imepụta emereme ndị ahụ ma nabata ihe ọbụla e ji nọchite anya ya. Ịmaatụ, n'*Ọjaadịlị*, Ogwumagala bụ ọkọ akụkọ jị ọnụ kọwapụta emereme ndị mere oge chukwu na-eke ụwa. N'otu aka ahụ, na-ngosipụta *Nwata Rie Awọ*, ọkọ akụkọ na-eji ọnụ ya kwuo afọ ole gatara n'etiti otu emereme na emereme ọzọ.

**iii) Nkwupụta echiche omee (Aside)**

Nhịahụ ọzọ a na-ezuta na ngosipụta ejije n'elu nkwago bu izipụta mbunuche maọbụ echiche ọgụụ. A na-agabiga nhịahụ a site na nkwupụta echiche omee. Nkwupụta echiche omee bụ nkenke okwu otu agwa na-ekwusara ndị nkiri iji gwa ha ihe na-aga ya n'uche. Agwa ndị ọzọ nọ n'elu nkwago ga-eme nti ka ha anụghị ihe agwa ahụ kwuru.

**iv) Nkwuruonwe omee (soliloquy)**

Nkwuruonwe omee bụ ogologo okwu otu agwa na-ekwusara onwe ya. Nkwuruonwe omee na nkwupụta echiche omee na-eyiṛịta onwe ha mana ha abụghị otu. Ndịiche dị n'etiti ha bụ na na nkwupụta echiche omee, agwa ndị ọzọ na-anọ n'elu nkwago ma na nkwuruonwe omee, ọ bụ naanị otu agwa na-anọ naanị ya n'elu nkwago. Ọzọ, bụ na nkwupụta echiche omee na-adị nkenke ebe nkwuruonwe omee na-adị ogologo. Ndịiche ọzọ dị n'etiti ha bụ agwa na-esite na nkwupụta echiche zipụta ihe ọ chere banyere agwa ibe ya ebe a na-eji nkwuruonwe, zipụta ọgụ ime mmụọ maọbụ

mgbagha agwa na-enwe n'ime onwe ya. Ọmụmaatụ nkwupụta echiche omee bụ otu agwa ikwu "onye a chee na m na ya kwụ" banyere agwa che na ya na ya kwu. Ọmụmaatụ nkwuruonwe bụ otu agwa itule ihe ya ga-eme banyere ọnọdụ ọ hụtara onwe ya, dịka "Kedụ ihe m ga-eme? Ọ bụ m gaa ebe ahụ ka ọ bụ hapụ?"

### 3.14 Isiokwu (Theme)

Ejije ọbụla na-enwerịrị isiokwu ọ gbadoro ụkwụ na ya. Isiokwu bụ ihe na-eme na ndụ maọbụ ihe nwere ike ime na ndụ nke ọrụ agụmagụ ọbụla na-ezipụta. Isiokwu abụghị ihe mmụta dị n'ejije kama ọ bụ mbunuche ejije ahụ. Otu ejije were ike inwe karịa otu echihe mana ọ bụghị mbunuche ndị ahụ niile bụ isiokwu ya. Isiokwu ọrụ agụmagụ ọbụla bụ ahịrịokwu nọchitere anya echiche niile e zipụtara n'ọrụ agụmagụ ahụ. Echiche ndị ọzọ e nwere ike ịhụta n'ejije ka a na-akpọ mgbakwunye isiokwu (sub-themes). Mgbakwunye isiokwu na-agbakọ aka ọnụ ezipụta isiokwu. Isiokwu abụghịkwa nhazi akụkọ (plot) maọbụ akụkọ n'onwe ya (story). Ọ bụghịkwa nchịkọta emereme dị n'ejije kama ọ bụ ọkpụrụkpụ echiche emereme dị n'ejije na-ezipụta. Isiokwu na-adịkarị n'ụdị ahiriokwu, nkebiahịrị maọbụ nkebiokwu nke na-eme ka ọgụụ maọbụ ndị nkiri nwee ntụgharị ụche. Ịmaatụ isiokwu *Ọjaadili* bu 'nganga bụrụ ụzọ'. Ajụjụ bụ, kedu ihe ga-eme ma nganga buru ụzọ? maobụ 'nganga buru ụzọ gịnị emee? Ọ dịzịrị ọgụụ na onye nkịrị obụla ịzara onwe ya ajụjụ a. Ọ bụ site n'ịza ajụjụ a ka ọgụụ na ndị nkiri si enweta ihe mmụta n'ejije.

### 3.15 Ndị nkiri (Audience)

Ndị nkiri bụ ndị na-ekiri ihe ngosipụta. Ha gụnyere ndị niile na-esonyeghị na mmepụta ejije. A naghị ahụta ha n'elu nkwago. Ha bụ isi a hụrụ kwawaokpu na mmepụta ejije. Ihe ngosi ọbụla na-enweghị ndị nkiri abụghị ejije. Ndi nkiri dị mkpa ka ejije wee tozue etozue ma dị ire. Ọ bụ ha na-ekwu ma ndị omee emere nke ọma ka ọ bụ na ha emeghị. N'ejije ọdịnaala, ndị nkiri na-esonye n'emereme site ịgwụ maọbụ ikwe egwu.

## 4.0 Mmechi

Ma a na-agụ ejije agụ maobụ a na-egosipụta ya egosipụta, e nwere ihe ndị kwesiri ka ahuta. Ihe ndị ahụ bụ mmebere ejije. Mebere ejije bụ njirimara ejije. Njirimara ejije ndị a na-agakọta ọnụ iji mee ka ndepụta maọbụ ngosipụta ejije dị ire. Otu agaghị adị ma e wepụ ibe ya. Ọ bụ mmebere ejije ndị a mere ka ejije dịwaga iche n'agụmagụ nakwa ihe ngosi ndị ọzọ.

**5.0 Nchịkọta**

Ejije nwere ihe na-eme ka ọ zuo oke. Ihe ndị ahụ ka a na-akpọ mmebere ejije. Mmebere ejije gụnyere agwa na akparamagwa; nṅomi na njije, emereme, nhazi akụkọ, ntọala, isiokwu, ndọrọndọrọ, mkpatara, nkwago, etemete, aria, ekike, asụsụ, na ndị nkiri dgz. Tupu a kpọọ agụmagụ maọbụ ngosipụta ọbụla ejije, ihe ndị a ga-ezu oke.

**6.0 Nnwale onye nduzi**

1. Depụta ma kọwaa mmebere ejije iri

**7.0 Nrụtụaka**


Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). Australia: Wadsworth Cengage Learning.

Achebe, C. A. (1965). Where angels fear to tread. *Nigeria Magazine*, 75, December p 62.

Akoma, I. E. (1977). *Obidiya*. Ibadan: Oxford.

Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature*. Lagos: Princeton..

Baker, A. L. (2001). Critical concepts: Characters and characterization. Retrieved from *https://www.k-state.edu/english/baker/english320/cc- character and characterization*.

Barnet, S. & Cain, W. E. (2000). *A short guide to writing abotu literature* (8th ed.). New York: Pearson Education.

Chukuezi, A. B. (1974). *Udo Ka Mma*. Ibadan: Oxford.

Cuddon, J. A. & Habib, M. A. R. (2014). *Dictionary of literary terms and literary theory*. New York: Penguin Reference.

Echeruo, M. J. C. (1982). The future of Igbo studies: A very modest proposal. In F.C. Ogbalu & E.N. Emmenanjo (Eds.), *Igbo language and culture 2* (pp.228-237). Ibadan: University Press.

Emenajo, E. N. (1982). What is creative literature? The case of Igbo. *Journal of SPILC*, 2(1), 35-46.

Emenanjo, E. N. (1987). Creative literature in African languages: The example of the Igbo. *Nka*, 1, 80-93.

Emenyonu, E. N. (1975).Who does Flora Nwapa write for? *African Literarture Today*, 7, 28-33.

Ezeaku, A. (2014). *Fundamentals of literature*. Awka: Fab Anieh

Forster, E. M. (1927). *Aspects of the novel*. Harmond-Sworth: Penguin

Fowler, R. (1978). *A dictionary of modern critical terms*. London: Rotuledge & Kegan Paul.

Goring, P., Hawthorn, J., & Domhnall, M. (2010). *Studying literature*. London: Bloomsbury Publishing

Kennedy, X. J. & Gioia, D. (2010). *Literature: An introduction to fiction, poetry and writing* (11th ed.). New York: Longman/ Pearson.

Kirszner, L. G. & Mandel, S. R. (2004). *Literature: Reading, reacting and writing literature* (5th ed.). Australia: Thomson Wadsworth.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mcllrath, P. (1955). Stereotypes, types and characterization in drama. Educational Theatre Journal, 7(1), 1-10. Retrieved from *https://www.jstor.org/stable/3204181*. Accessed on 17/01/19.

Mezu, S. O. (1974). *Ụmụ Ejima*. Ibadan: Black Academy Press.

Murfin, R. & Ray, S. M. (1998). *The Bedford glossary of critical and literary terms.* Boston: Bedford/Martins.

Nchikogwa, J. O. (2008). *The essentials of literature*. Enugu: Abic Books.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J., Omobowale, T., Ododo, S. E. & Adebiyi, K. (2014). *Exam focus: Literature in English for WAEC (WASSCE) and NECO (SSCE)*. Ibadan: University press.

Nwaozuzu, G. I. (2005). *Nke M Ji Ka*. Enugu: Format Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2009). *Eruru*. Enugu: Format Publishers.

Okeke, J. C. (2009). *Amaghị Igbo Asụ Oyibo*. Onitsha: Edumail publishers.

Okodo, I. (1992). *The study of literary terminology and appreciation*. Onitsha: Foot Marks.

Onyekaonwu, G. O. (1980). *Nwata Rie Awọ*. Ibadan: Oxford.

Ugonna, N. (1979). A brief survey of development of the Igbo novel. *Nsukka Studies in African Literature*, 2(1), 30-47..

Uzochukwu, S. (2012). *Nnyocha akanka*. Obosi: Pacific Correspondence College Press.

**Modul 2 Nkenụdị ejije Igbo**

**Yunit 1 Ejije ọdịnaala Igbo**

1.1 Gịnị bụ ejije ọdịnaala Igbo?

1.2 Nkenudi ejije ọdịnaala Igbo

1.3 Mmebere ejije dị n'ejije ọdịnaala Igbo

1.4 Njirimara ejije ọdịnaala

**Yunit 2 Ejije ederede Igbo**

2.1 Gịnị bụ ejije ederede Igbo?

2.2 Ntọala na ntọlite ejije ederede Igbo

2.3 Nkenụdị ejije ederede Igbo

2.4 Njirimara ejije ederede

**Yunit 1 Ejije ọdịnaala Igbo**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3.1 Gịnị bụ ejije ọdịnaala Igbo?

3.2 Nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo

3.3 Ọ dị maọbụ ọdịghị ejije ọdịnaala Igbo?

3.4 Nkenudi ejije ọdịnaala Igbo

3.5 Njirimara ejije ọdịnaala

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nnwale onye nduzi

7.0 Nrụtụaka

**1.0 Mkpọlite**

Na yunit 1 a kọwara agụmagụ ma gakwaa n'ihu kwuo na agụmagụ dị ụzọ abụọ - nke ọdịnaala na nke ederede. Na yunit a, a ga-eleba anya n'agụmagụ ọdịnaala tụmadị ejije ọdịnaala. Agụmagụ

ọdịnaala bụ agụmagụ ndị ahụ a na-amaghị ntọala maọbụ ntọlite ha. A na-akpọkwa ha agụmagụ ọnụ n'ihi na e detughị ha edetu n'akwụkwọ. A na-emepụta maobụ agụpụta ha n'ọnụ. Agụmagụ ọnụ na-ehiwe isi n'omenaala nke a mere e ji akpọkwa ya agụmagụ ọha n'ihi na ọbụghị ihe otu onye kama ọ bụ ihe ọha obodo nke na-esi n'aka fere aka. N'aka nke ọzọ, agụmagụ ederede bụ agụmagụ ndị ahụ e depụtara n'akwụkwọ ka ndị mmadụ gụọ. Agụmagụ ma ọ bụ nke ọdịnaala ma ọ bụ nke ederede nwere ngalaba – abụ, akụkọ na ejije. Na yunit a, a ga-eleba n'uju n'ejije ọdịnaala.

**2.0 Mbunuche**

Na njedebe yunit a, ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

i. Ịkọwa ejije ọdịnaala Igbo

ii. Ikwu atụtụ dị iche iche maka nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo

iii. Ikwu nkenuụdị ejije ọdịnaala Igbo

iv. Ịkọwa mmebere ejije a na-ahụta n'ejije ọdịnaala Igbo

v. Ikwu njirimara ejije ọdịnaala Igbo

**3.0 Ndịna kpọm kwem**

**3.1 Gịnị bụ ejije ọdịnaala Igbo?**

Tupu a kọwaa ejije ọdịnaala Igbo, a ga-ebu ụzọ kọwaa ihe bụ ejije ọdịnaala. Ejije ọdịnaala bụ ihe ngosipụta ndị ahụ gbanyere mgbọrọgwụ n'omenaala nke a na-esite na ya ezipụta nkwenye na echiche ndị. Ọ bụ emereme dị iche iche gbasoro ezi usoro nke a na-emepụta n'obom, n'ihu ndị nkiri. Ọ dị ihe abụọ a na-agbakwasa ụkwụ na nkọwa ejije ọdịnaala. Ha bụ oge (time frame) na ndịna (content). A bịa n'oge, ejije ọdịnaala bụ ejije ndị ahụ dị ọkpụtọrọkpụ a maghị oge e jiri malite imepụta ha. Ha gụnyere emereme niile a na-eme tupu mmepe (civilization), agụmakwụkwọ na ọbịbịa ndị ọcha. Nke a pụtara na a maghị oge o jiri malite kpọmkwem maọbụ ndị malitere imepụta ya. Ọ pụtakwara na edetughị ya edetu. A bịa na ndịna, ejije ọdịnaala bụ ejije ndị ahụ na-ezipụta omenaala. A na-akpọkwa ejije ọdịnaala egwuregwu n'ihi na emereme niile a na-emepụta na ya bụ njije nke mbunuche ya bụ ịkpa ndị nkiri obi ọma. N'otu aka ahụ, ejije ọdịnaala Igbo bụ ihe ngosipụta maọbụ emereme dị ọkpụtọrokpụ iche iche nke ndị Igbo ji egosipụta nkwenye na usoro ebimndụ ha. A na-ahụtakarị ejije ọdịnaala Igbo n'emume dị iche iche e nwere n'ala Igbo.

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ ejije ọdịnaala?

**Ọ dị maọbụ ọ dịghị ejije ọdịnaala Igbo?**

E weela ndọrọndọrọ banyere ma ndị Igbo e nwere ejije ọdịnaala ha ka ọ bụ na ha enweghị. Ndị nọ n'isi oche ndọrọndọrọ a bụ M. C. Echeruo n'otu aka nakwa O. O. Enekwe n'aka nke ọzọ. Echeruo mere nchọcha banyere mmọnwụ Odo ndị Akụ Nsụka wee chọpụta na e nwere mmebere ejije ụfọdụ na ya bụ ihe ngosipụta mana emereme dị nay a agbasoghị ezi usoro. Na nkọwa ya, e nweghị idi n'otu oge, ebe na emereme nke e ji enwe isiokwu maọbụ nhazi doro anya. O kpebiri na ganye na a hazie ihe ngosipụta mmọnwụ a n'ezi usoro, o tozughị ịbụ ejije. Ọ gbadoro ụkwụ na nchọcha ya wee kwuo na ndị Igbo enweghị ejije ọdịnaala. Mmadụ dịka Kalu Ụka na ndị ọkammụta ndị ọzọ kwenyere n'ihe Echeruo kwuru. Ndị kwenyere na ihe ngosipụta a na-eme n'ala Igbo etozughị ịbụ ejije ka a na-akpọ ndị *evolushọnisiti*. Ka o sila dị, ndị ọkammụta ndị gụnyere O.O. Enekwe, J.N. Amankụlọ, Meki Nzewi na Nnabụenyi Ugonna katọrọ echiche ndị evolushonisti site n'ikwu na ihe ngosipụta dị iche iche e nwere n'ala Igbo tozuru n'uju, ịza ejije. Ha kwuru na Echeruo riri mperi mgbe o jiri usoro ndị ọcha ọkachasị usoro ndị mba Gris wee tulee ihe ngosipụta Igbo. N'uche ha, nkụ dị na mba na-eghere mba nrị n'ihi ya iji usoro ndị mba ọzọ, tulee ọrụ nka ndị mba ọzọ adabaghị adaba. Ha mere ka a mata na a gbasoo usoro ndị Igbo si emepụta ihe ngosi nke ha wee tulee usoro ndị Gris maọbụ agburu ọzọ, na ihe mmepụta agburu ndị ọzọ ahụ ga-eri mperi. Ha sị na ihe kacha mkpa bụ na ọrụ na uru ihe ngosipụta ndị a na-arụ n'obodo dị iche iche bụ otu. Ndị kwenyere na ihe ngosipụta ọdịnaala Igbo dị iche iche bụ ejije ka a na-akpọ ndị *riletivisiti*.

Ndị riletivisiti tuuru ugo na ya bụ ndọrọndọrọ nke mere ka a na-amụ maka ejije ọdịnaala n'ogo akwụkwọ dị iche iche ma na-emekwa nchọcha banyere ya.

**Nnwale ọnwe 2**

1. Ndị Igbo enweghị ejije ọdịnaala. Kwadoo maọbụ katọo echiche a

2. Depụta ma kọwaa atụtụ atọ na-akọwa nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo

**Nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo**

Mgbe ọbụla a na-ekwu maka mbido ihe bụ ọdịnaala maọbụ ọdịbendị, a na-ekwu maka nsiripuru (origin) ya ma a na-ekwu maka ihe ndị ọzọ, a na-ekwu maka ntọala na ntọlite ya (history and development). Dịka mpaghara omenaala, onweghị onye mara mgbe maọbụ etu ejije ọdịnaala si bido kpọmkwem. Ka o sila dị, e nwere echiche dị iche iche banyere etu ejije ọdịnaala Igbo si puru. Ikeokwu (2019) kwuru na e nwere atụtụ atọ na-ekwu etu ejije ọdịnaala Igbo siri malite. Na nkọwa ya, atụtụ ndị a gbasoro usoro atụtụ agharambido (polygenesis) na mbasa (diffusionism) maka nsipuru agụmagụ ọnụ n'izugbe. A ga-eleba anya n'atụtụ ndị a n'otu n'otu.

**Atụtụ mmemme**

Ndị tụpụtara atụtụ a na-akọwa na ejije ọdịnaala Igbo sitere na mmemme dị iche iche e nwegasịrị n'ala Igbo puru. Ndị kwenyere n'atụtụ a kwuru na a na-enwe ihe ịkpa amụ ma ọ bụ mkpaọchị na mmepụta mmemme ndị a. N'uche ha, ọ bụ site na mkpaọchị a ka ejije ọdịnaala si puru. Ụfọdụ mmemme ọdịbendị e nwere n'ala Igbo gụnyere Ịgụ arọ Nrị, Enugwu-Ukwu, Ụmụeri na Abagana, Ịgba ọfala, Ịgba Ekpe Ishingwu Ọhụhụ, Ụmụọpara na Ibe; Olokoro Ụmụahịa na Nsulu Ngwa, Iri

agha Ọhafịa, Ịla ọsọ Uzuakọli, Odo Igbo Nsụka na Ọmabe Igbo Nsụka; Ịgba Uri Egbe na Okoroshịa ndị Ọlụ dgz. Ọ bụ site n'ijije emereme ndị dị n'mmemme ndị a nakwa ndị ọzọ ka ejije si puru.

**Atụtụ akụkọ ifo**
Atụtụ a na-ekwu na ọ bụ site n'akụkọ ifo ka ejije ọdịnaala si puru. Ndị kwadoro atụtụ a na-akọwa na mgbe ọkọakụkọ ifo na-akọ akụkọ, ọ ga-ejije agwa na akparamagwa niile pụtara ihe n'akụkọ ya. Ọ na-ejije ihe dị ndụ dịka akụkụ ubi niile, anụmanụ niile, mmadụ niile na ihe adịghị ndụ dịka mmụọ niile, okwute dgz. Ọ ga-ejije agwa ndị a n'ụzọ ndebeolu, ekwumekwu, emereme, ọgịga ije, mmegharị ahụ dị iche iche ma ọ bụ ihe ndị ọzọ e jiri mara agwa ndị ahụ. Ndị tụpụtara atụtụ a kwenyere na ọ bụ n'ụzọ dị etu a ka ejije ọdịnaala si malite.

**Atụtụ abamaba**
Atụtụ na-ekwu na ejije sitere na njije usoro abamaba/otu e nwegasịrị n'ala Igbo puru. Abamaba maọbụ otu ndị a gụnyere otu ọgbọ, Ọkọnkọ, mmọnwụ, Ọkọmbọ, Ekpe, Akan dgz. Otu ndị a nwere usoro na-enwe emume atọ, emume nke ọ bụla nwere nkebi dị iche iche yiri ụdị a na-enwe n'ejije. Emume ndị a gụnyere: Nkewapụ (Separation), Njikọ/Nnọkọ (Aggregation) na Nnabata (Integration). Na nkewapụ, ndị na-aba n'otu ga-ahapụ nne, nna, umụnne na ikwu na ibe ha gaa ebe mmadụ agaghị ahụta ha anya. Ebe ha na-aga bụ ebe a ga-anọ kuziere ha ihe nzuzo banyere otu ha chọrọ ịbanye. Na njikọ maọbụ nnọkọ, ndị a na-achọ ịnabata n'otu nakwa ndị nọ n'otu na-anọkọrịta. A na-akụziri ihe ihe nzuzo na nka dị iche iche. Ha mụtachaa, ha adị njikere ịlọghachi. Na nnabata, ndị ahụ jere ọzụzụ na-alọghachite n'obodo. Nlọta ha na-abụ ihe oke ọṅụ. A na-eme mmemme maka nlọta ha ebe a nọ rie, taa ma ṅụọ. Ndị jere ọzụzụ na-emepụta nka ndị ahụ dịka ịgba egwu na mmegharị ahụ dị aṅaa n'ihu ndị mmadụ. E kwenyere na ọ bụ ụzọ dị etụ a ka ejije ọdịnaala si puru.

**Nnwale onwe 3**
1. Depụta ma kọwaa atụtụ atọ banyere nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo

**3.2 Nkenudi ejije ọdịnaala Igbo**

Ejije ọdịnaala Igbo dị n'ụdị n'ụdị. E were ike ịkewa ya ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ:

(i) Ejije ndị na-esote emume

(ii) Ejije ndị na-anaghị esote emume

**1. Ejije ndị na-esote emume**

Ndị a gụnyere ejije ọdịnaala ndị a na-emepụta naanị oge a na-eme otu emume maọbụ ọzọ. Ejije ndị na-esote emume gụnyere:

**A) Ejije Mmọnwụ**

Ejije mmọnwụ bụ ejije ọdịnaala kacha baa ụba. Ọ bụ ejije nke a na-anọ na ya nṅomie ma jijie ndịichie. Na nghọta ndị Igbo, ndịichie bụ nna nna anyị ha ndị nwụrụ anwụ. E kwenyere na mmụọ ndị nna nna ahụ nwụrụ anwụ na-abịa anọnyere ndị ha oge ọbụla a na-eme mmemme. Nke a mere na mmọnwụ na-apụtakarị n'emume ndị Igbo. Na nkwenye ndị Igbo, mmụo na mmadụ na-

emekọrịta n’ihi na site n’ọnwụ, mmadụ na-abụ mmụọ, sitekwa na mmụnwe/ ịlọ ụwa (reincarnation), mmụo na-abụ mmadụ.

**Mmebere ejije a na-ahụta n’ejije mmọnwụ**

Njirimara ejije ndị a na-ahụta na ihe ngosipụta mmọnwụ gụnyere:

i) Agwa na akparamagwa: A na-enwe agwa dị iche iche ndị na-emepụta emereme dị ịche iche dịka ịpịa ụtarị, ịgba egwu, ịrịọ ego na ikpezi ikpe. E nwere mmọnwụ ndị na-enwere agwa anụmanụ dịka Enyi mmọnwụ na Ugo; ndị na-enwere agwa nwaanyị dịka Adamma na ndị na-enwere agwa nwoke dịka ụlaga na ajị buusu. E nwekwara mmọnwụ ndị na-akpa ndị mmadụ ọchị dịka Ọkụ ekwe. E nwekwara ndị na-eso mmọnwụ. Ụmụnwaanyị anaghị esonye na ndị omee ejije mmonwụ.

ii) Njije na nṅomi: Mmọnwụ dị iche iche na-ejije akparamagwa ndị mmụọ site n’ije ụkwụ na olu ha. Ndị mmadụ na-akwanyere mmọnwụ ugwu puru iche site n’ikwenye na ha bụ mmụọ ndị nna nna ha n’eziokwu.

iii) Nkwago: Ụfọdụ ndị ọkammụta na-akpọ ebe mmepụta ihe ngosi ọdịnaala, obom, iji zipụta ụdị ebe nkiri a na-enwe n’ejije ọdịnaala Igbo. Ebe mmepụta ejije ọdịnaala na-abụkarị ama maọbụ etiti obodo, ụlọ eze maọbụ ụlọ arụsị. Ebe ga-abụ eme mmepụta n’ejije ọdịnaala Igbo na-esite n’emume a na-eme nakwa ebe mmepụta emume ahụ. A na-emepụta ejije mmọnwu n’ama obodo maọbụ n’ahịa obodo. N’oge ụgbu a, a na-emepụtakwa ya n’okporo ụzọ.

iv) Etemete: mmọnwụ dị iche na-enwe etemete dị iche iche n’ahụ ha. N’otu aka ahụ ndị na-eso mmọnwụ na-eji nzu maọbụ uri aka akara ọdịmara dị iche iche n’ahụ ha.

v) Ejiji/ekike: Ejiji mmọnwụ ndị Igbo dị iche iche bụ ihe na-eme ka ha chaba ndị nkiri site mba ụwa dum anya. A na-esite n’ejiji mmọnwụ mata aha ya maọbụ ụdị mmọnwụ ọ bụ. Ejiji mmọnwụ gụnyere isi mmọnwụ na akwa.

vi) Arịa: e ji arịa dị iche iche, dịka akụpe, ụtarị, ekwe, ogene, dgz., emepụta ejije mmọnwụ.

vii) Egwu/ụda: ndị na-eso mmọnwụ na-akụ ngwa egwu dị iche iche dịka ekwe, ọja na ogene oge mmọnwụ na-aga. Ụfọdụ oge a na-agwụ egwu maọbụ ama mbem iji too mmọnwu oge ọ na-eme ihe ngosipụta.

viii) Nkoobielu (suspense): obi ndị nkiri na-eko n’elu mgbe mmọnwụ ọ kacha ndị na-eme anwansị dịka Wọnda na Ịzaga na-eme emereme e ji mara ha. Tụmadị na ndị nkiri na-ahụ emereme mmọnwụ ndị a ugboro ugboro, obi na-eko ha n’elu oge ọbụla a na-emepụta ha.

ix) Ndị nkiri: ejije mmọnwụ bụ nke ọtụtụ mmadụ na-aputa ile. Ndị na-abụ ndị nkiri n’ejije mmọnwụ bụ ọha obodo ndị gụnyere ndị nna, ndị nne, ndị ntorobia na ụmụaka.

x) Nkụpụta mmetụtaobi: ejije mmọnwụ na-akụpụtakarị mmetutaọbị aṅụrị na egwu n’ime ndị nkiri. Mmọnwụ ndị na-agba egwu na-akpa ndị nkiri obi aṅụrị ebe ndị na-eme anwansị na ndị na-apịa ụtarị na-etinye ndị nkiri ọkachasị ụmụnwaanyị egwu maọbụ ụjọ n’ahụ.

**B) Ejije mgba**

Mgba bụ egwuregwu e ji asọ mpi onye ka ibe ya ike n'ihu ndị nkiri. Mgbe a na-agba mgba, mmadụ abụo na-eji nka dị iche iche agbalị ka azụ ibe ya detu ala. ndị Igbo na-eji mgba egosipụta mmụọ asọmpi n'etiti ndị ntorọbịa. Mgba abụghị ọgụ. Mgba bụ egwuregwu ma ọgụ abụghị egwuregwu. Ka o sila dị, ọbụghị mgba nịịle bụ ejije. Mgba bụ ejije naanị mgbe e ji ya egosipụta nkwenye maọbụ nkọmịrịkọ ndị. N'obodo ndị na-agba mgba, ọkamgba nwụọ, a na-eji mgba akwa ya iji gosi na a ga na-echeta ya maka ọrụ aka ya. Na Nsụde Udi, e ji mgba echeta ọkamgba Uto nwụrụ na mgbe gboo, bụkwa onye e buliri n'ọnọdụ chi a na-efe efe na Nsụde ruo taa. Na Neni, a na-eji mgba echeta Pawa Maiki bụ onye kacha sie ike n'ụwa oge ọ dị ndụ. E mee mmee ncheta ndị dike/dimgba ndị a na ndị ọzọ yiri ya bụ ejije n'ihi na a na-enwe nṅomi na njije na ha.

**CH) Ejije agha**

N'ala Igbo tụmadị n'obodo ndị lụrụ agha n'oge gboo, a na-ejije etu e siri buo agha, gbuo ndị mmadụ, gbute isi ndị mmadụ, Ntọrọ ndị mmadụ ma ọ bụ etu e si kpaa ike dị iche iche oge a na-alụ agha. Ọ bụ iji cheta oke akpamike ndị odogwu dị iche iche kpara n'agha nke wetere obodo mmeri ka e ji emepụta ụdị ejije a. A na-enwe emume nke a na-anọ na ya zipụta nkọmịrịkọ ndị a. N'Anam, a na-eme emume Nzuruanị, nke a na-anọ na ya, zipụta etu ndị Anam na Abọ si lụọ agha. A na-enwe ndị omee na-akpa akparamagwa ndị agha ndị Anam nakwa ndị na-akpa akparamagwa ndị agha ndị Abọ. Otu abụọ ga-emepụta egwuregwu agha. N'ikpeazụ, ndị agha ndị Anam na-emerị. Ha na-eji isi mmadụ a tụrụ atụ, e fesara obara n'aka iji gosi na ha gbutere isi ọchịagha ndị abọ. N'ejije agha, a na-enwe nṅomi na njije nakwa emereme dị iche iche. A na-agụkwa egwu agha oge a na-emepụta ejije agha.

**2. Ejije ndị na-anaghị esote emume**

**A) Ejije ụmụaka:** Ụmụaka mgbe ọ bụla ha nọkọrọ ọnụ na-ejije ndị okenye ma ọ bụ ndị tọrọ ha n'ihe niile ha na-eme. Dị ka ịchụ nta, isi nri, ịbụ nne na nna, ịgba odibo, ịrụ ọrụ ubi, ọrụ ọkwanka, ọkwọ ụgbọala, ịgba bọọl (ka Nwankwo Kanu, Okocha, dgz), ịbụ ụkọchukwu, onye nkụzi, nọọsụ, dọkịnta, dgz. Naanị ihe ha enweghi ike ijije bụ ihe ha ahụbeghi mbụ. N'egwuregwu ụmụaka, ha na-ahorọ maọbụ kenye onwe ha agwa na akparamagwa. Nwata obụla sonye n'egwuregwu na-agba mbọ ịṅọmi ma jijie agwa na akparamagwa nke ya site na mgbanwe olu, ije ụkwụ, ekike na etemete nakwa arịa dị iche iche. Ụmụaka na-esite n'ijije ihe ndị gbara ha okirikiri anọrị oge.

**Nnwale onwe 4**
1. Kedụ otu abụọ e were ike ịhanye ejije ọdịnaala?
2. Kọwaa ejije mmọnwụ n'uju.
3. Gịnị bụ ejije mgba?
4. Kọwaa ejije agha.

**3.4 Njirimara ejije ọdịnaala**

E nwere ọtụtụ ihe ndị kewapụtara ejije ọdịnala na nke ederede. Ha gụnyere:

**ị Enweghị ezi usoro nhazi akụkọ:** Ejije ọdịnaala enweghị otu usoro eriri akụkọ jikọrọ emereme ya dị iche iche ọnụ. Nkebi ya na-adị aghara aghara n'enweghi etu emereme nke ọ bụla ji metụta ndị

ọzọ ya na ha nọ n'otu ngosi. Ụdị a ka Okebalama (2003:84) kpọrọ njirimara "ewetaetii." Ọ bụghị otu usoro ihe ka a na-akọ maka ya n'ebe a. E lee anya n'usoro ejije ederede, ọ na-enwe otu usoro eriri akụkọ. Dị ka *Nkemjika* nke G. I. Nwaozuzu na-akọ maka etu otu eze (Eze Onyekwere) si mesie nwunye ya (Ugochi) ike maka na ọ mụtaghị nwa nwoke. Usoro nhazi akụkọ nwere otu eriri akụkọ dị otu a adịghị n'ejije ọdịnala.

**ii) Ọ naghị abu nke otu onye:** Ejije ọdịnaala bụ nke ọha obodo nwe. Otu onye maọbụ otu anaghị enwe ya dị ka agụmagụ ederede. E nwere ike e nwee onye maọbụ ndị na-emepụta ejije ọdịnaala mana nke a apụtaghị na ọ bụ ha nwe ya. Ike gwu ndị na-emepụta ejije ọdịnaala maọbụ na ha enweghị oghere maọbụ mmasị, ndị ọzọ ga-anochi anya ha ozugbo.

**iii) Ọ na-enwe ntọaja, ihe nzuzo na nsọ:** Ejije odịnaala na-abụkarị nsiripuru mmemme dị iche iche n'ala Igbo n'ihi ya a na-enwekarị ntọaja metụtara ịchụ aja, ịgọ ọfọ, ịwa ọjị, ihe nzuzo, anwansi ma ọ bụ ihe dị aṅaa bụ nke a na-ezoro ọtụtụ anya ịhụ, n'ime ya. Ntọaja na-enwe ihe nzuzo n'ime ya nke anaghị ahapụ ụmụ nwaanyị, ụmụaka na ụmụ nwoke abaghị abamaba nzuzo ahụ ka ha hụ maọbụ mara. Ihe nzuzo na-eme ka e wee nsọ dị iche iche na mmepụta nakwa ngosipụta ejije ọdịnaala. Nsọ ndị a were ntaramahụhụ dị iche iche maka onye mere ha. Ndị nkiri bụ ndị na-adị na nsọ. Ịmaatu, e nwere mmọnwụ ndị nkiri ụmụnwaanyị na ụmụaka ekwesighị ịhụ. Dịka Asatọ Ụmueri, Odumodu Anam dgz.

**iii) Ọtụtụ ekwumekwu adighị na ya:** Ime nka (performance) na-ejuputa n'ejije ọdịnaala. Nka a na-eme gunyere ịgba egwu, ịkụ egwu na ime anwansị dị iche iche iji kpaa ndị nkiri obi ụtọ. N'ihi ya, a naghị enwe ọtụtụ ekwumekwu n'ejije ọdịnaala. A na-enwe ọtụtụ ngagharị na oke mmegharị ahụ n'ejije ọdịnaala karịa ekwumekwu, nke mere na mgbe ụfọdụ e chee na ọ bụ ejije ogbi.

**Ngosipụta na-ewe ọtụtụ oge**: N'ejije ederede, ngosipụta anaghị enwe karịa awa atọ mana n'ejije ọdinaala, ngosipụta nwere ike iwe otu ụbochị, izu, otu ọnwa, maọbụ karịa. Ihe kpatara ya bụ na a na-enwe ọtụtụ ntọala ebe dịka n'ime ọhia, n'akụkụ maọbụ n'ime mmiri, ụlọ eze, okwu arụsị, mbara ezi dgz., n'ejije ọdịnaala. N'ejije ederede maọbụ ọgbaraọhụụ, naanị nkwago bụ ebe mmepụta e nwere nke na-eme ka a ghara ime njemsite n'otu ntọala ebe rụe ebe ọzọ. N'otu aka ahụ, ndị nkiri na-anọ site na mbido rue na ngwụcha ngosipụta emereme ejije ọgbaraọhụụ mana n'ejije ọdịnaala, ndị nkiri anaghị anọ site na mbido rue na ngwụcha maka na ọ na-ewe ọtụtụ oge.

**Ọ na-enwe ekike na etemete na-achaba n'anya :** Ụdị ekike na etemete a na-ahụta n'ejije ọdịnaala,anaghị abụ ụdị ekike kwa ụbọchị. A na-eji ekike achọpụta agwa na akparamagwa a ga-atụ anya ha n'ejije. Onye dibịa na-eyikarị akwa ọcha maọbụ akwa na-acha ọbara ọbara ma daa nzu n'anya, onye Eze/Igwe na-eke ekike eze/igwe, ọkamgba na onye agha na-egosipụtakwa ekike nke ha dị ka ajịị, agwọ/akpụkpọ anụ; mmọnwụ dị iche iche na-eyi akwa mmọnwụ ha. Mmọnwụ na-ete ihe otite n'ụkwụ, n'aka, n'ihu ma ọ bụ akụkụ ahụ dị iche iche iji zokpuo njirimara nsinachi ya bụ nke nwere ike ime ka a chọpụta ya ọsịịsọ n'atụfughi mgbe. Ọ bụrụ na ndị nkiri amata onye kpu mmọnwụ, ọ ga-eme ka ha ghara ịtụ ya egwu maọbụ nye ya nsọpụrụ. N'ihi ya, a na-etechi mpaghara ahụ onye ahụ iji gbochie ụdị ọnọdụ a. Ihe e ji eme etemete gụnyere unyi, uhie, nzu, uri dgz. Ekike na etemete so n'ihe na-akwalite ejije ọdịnaala ma na-eme ka ndị mmadụ na-enwe mmasị ikiri ya.

**Olundị bụ asụsụ ngosi:** Asụsụ e ji emepụta ejije ọdịnaala bụ olundị obodo e ji mere ntọala ebe. A naghị etinye anya ma ndị nkiri niile a na-aghọta olundi maọbụ asụsụ ahụ ka e si eme n'ejije

ọgbaraọhụụ. N’ihi na ejije ọdịnaala na-ejupụtakarị n’ihe ngosipụta karịa ekwumekwu, asụsụ mmepụta anaghị abụkarị nsogbu nye ndị nkiri.

**Nnwale ọnwe 5**
1. Depụta ma kọwaa njirimara ejije ọdịnaala Igbo ise.

## 4.0 Mmechi

Ndị Igbo nwere ejije ọdịnaala ha nke na-apụtakarị ihe n’emume ndị Igbo dị iche iche. Ọbụghị ihe ngosiputa ọdịnaala bụ ejije. Ọ bụ naanị ihe ngosipụta e nwere nṅomi na njije n’ime ha bụ ejije.

## 5.0 Nchịkọta

Ejije odịnala Igbo bụ ejije na-ezipụta nkwenye na echiche ndị Igbo. E nwere arụmụka n’etiti ndị evolushọnistị na ndị riletivisti banyere ma ọ dị maobụ ọdịghị ejije ọdịnaala Igbo. Ndị riletivisti meriri nay a bụ arụmụka. Ejije odịnaala Igbo nwere njirimara ya ndị gụnyere na o nweghị ezi usoro nhazi akụkọ, ọ bụ nke ọha, ọ na-ewe otụtụ oge, ọ na-enwe ntọaja, anwansị na nsọ n’ime ya. E nwere ụdị ejije ọdịnaala Igbo dị iche iche dịka ejije mmọnwụ, ejije mgba na ejije ụmụaka. E wekwara atụtụ atọ na-akọwa etu ejije ọdịnaala siri malite.

## 6.0 Nnwale onye nduzi

1. Kọwaa ejije ọdịnaala Igbo.

2. Ndị Igbo enweghị ejije ọdịnaala. Kwadoo maọbụ katọo echiche a.

3a Depụta ma kọwaa atụtụ atọ na-akọwa nsiripuru ejije ọdịnaala Igbo.

3b Kedụ atụtụ ị chere kacha daba?

4. Kọwaa n’uju ụdị ejije ọdịnaala anọ ị maara.

5. Olee njirimara ejije ọdịnaala ise ị maara?

## 7.0 Nrụtụaka


Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature*. Lagos: Princeton..

Echeruo, M. J. C. (1982). The future of Igbo studies: A very modest proposal. In F.C. Ogbalu & E.N. Emmenanjo (Eds.), *Igbo language and culture 2* (pp.228-237). Ibadan: University Press.

Emenajo, E. N. (1982). What is creative literature? The case of Igbo. *Journal of SPILC*, 2(1), 35-46.

Emenanjo, E. N. (1987). Creative literature in African languages: The example of the Igbo. *Nka*, 1, 80-93.

Ikeokwu, E.S. (2019). *Mkpọlite ọmụmụ ejije Igbo* . Nsụkka: University of Nigeria Press.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mcllrath, P. (1955). Stereotypes, types and characterization in drama. Educational Theatre Journal, 7(1), 1-10. Retrieved from https://www.jstor.org/stable/3204181. Accessed on 17/01/19.

Mezu, S. O. (1974). *Ụmụ Ejima*. Ibadan: Black Academy Press.

Murfin, R. & Ray, S. M. (1998). *The Bedford glossary of critical and literary terms.* Boston: Bedford/Martins.

Nchikogwa, J. O. (2008). *The essentials of literature*. Enugu: Abic Books.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Ifunaya Publishers.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnala Igbo*. Onitsha: Africana First Publishers

Ugonna, Nnabuenyi (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo.* Ikeja: Longman Nigeria

Uzochukwu, S. (2012). *Nnyocha akanka*. Obosi: Pacific Correspondence College Press.

## Yunit 2 Ejije ederede Igbo

**Ndịna**

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3.1 Gịnị bụ ejije ederede Igbo?

3.2 Ntọala na ntọlite ejije ederede Igbo

3.3 Nkenụdị ejije ederede Igbo

3.4 Njirimara ejije ederede

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nnwale onye nduzi

7.0 Nrụtụaka

## 1.0 Mkpọlite

Na modul 1 yunit 1, e kwuru na agụmagụ na ngalaba ya na-adị n'ụdị abụọ; nke ọdịnaala na nke ederede. Na yunit 1 nke modul a, e lebara anya n'ejije ọdịnaala Igbo. Ugbu a, a ga-eleba anya n'ejije ederede Igbo.

## 2.0 Mbunuche

Na njedebe yunit a, ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

i. Ịkọwa ejije ederede Igbo.

ii. Ịkọwa etu ejije si tolite.

iii. Ikwu nkenuụdị ejije ederede Igbo.

iv. Ikwu njirimara ejije ederede Igbo.

## 3.1 Gịnị bụ ejije ederede Igbo?

Ejije ederede Igbo bụ ejije ndị ahụ na-ezipụta nkwenye na echiche ndị Igbo nke e depụtara n'asụsụ Igbo. Dịka e si kọwaa na mbụ, e weela arụmụka banyere ihe bụ na ihe abụghị agụmagụ Igbo. Agụmagụ Igbo tozuru etozu bụ agụmagụ ndị ahụ asụsụ ndepụta ha bụ asụsụ Igbo. Agụmagụ ndị na-ezipụta omenaala Igbo maọbụ ndị ntọala ebe ha bụ akụkụ ala igbo dị iche iche mana asụsụ ndepụta ha abụghị asụsụ Igbo, etozughi ịza agụmagụ Igbo. Ya mere na ejije ederede Igbo bụ ọrụ nka e dere n'usoro e wepụtara maka ide ejije, n'asụsụ Igbo.

**Nnwale onwe 1**

1. Gịnị bụ ejije ederede Igbo?

## 3.2 Ntọala na ntọlite ejije ederede Igbo

Ejije ederede Igbo ebidoghị n'oge ka iduuazị. E nweghị akwụkwọ ejije e dere n'Igbo ganye na a lụchaa agha Biafra na Naijiria. Tupu agha Bịafra, ndị Igbo etinyeghị anya n'ihe gabsara ịkwalite agụmagụ ha dịka agburu ndị ọzọ dị na Naijiria. Ọtụtụ ndị ọkammụta a tụpụtala ihe ha chere mere ejije ederede Igbo ejighị malite n'oge. Ihe ndị ahụ gụnyere:

i. Ndị ụka etinyeghị anya n'ejije. Ndị ụka bụ ndị webatara ọgụgụ na odide n'usoro bekee n'ala Naijiria. Ha sitere n'ihe ndị a maara wee kuzie ihe amaghị. Nke a pụtara na ha ji ọdịbendị ndị Igbo were mere ebe mgbakwasa ụkwụ ha. Nwachukwu-Agbada (2017) kọwapụtara na ejije ọdịnaala Igbo juputara na ntọaja nke ekpemekpe ndị ụka anabataghị. N'ihi ya, ndị ụka kwapụrụ ejije n'akụkụ ma tinye anya naanị n'iduuazi nke na-enyere ha aka n'ịkwalite ekpemekpe ha.

ii. Ndọrọndọrọ ọtọgrafị : e were ndọrọndọrọ banyere ọtọgrafi izugbe a ga eji na-edepụta Igbo malite n'afọ 1930 rue n'afọ 1961. Nke a mere ka egwu imefu ego ha na-atụ ndị ụlọọrụ mbipụta, ibipụta akwụkwọ ọbụla n'asụsụ Igbo. Aka ndị ụka dị na ya bụ ndọrọndọrọ tụmadị ndị CMS na ndị RCM. Ndị ọtu ụka abụọ ndị a chọrọ ka ọ bụrụ ọtọgrafị ha ji dee agụmagụ nke ha n'otu n'otu ka a họọrọ. Mbunuche ndị ụka a mere ka ndọrọndọrọ ọtọgrafị e nwere bawanye ma too aka.

iii. Ndị Igbo enweghị mmasị n'ebe asụsụ ha dị: Ndị Igbo, bụ ndị ọ bụ ọrụ ha idepụta akwụkwọ agụmagụ dị iche iche maka agamniihu asụsụ na omenaala ha, enweghị mmasị ide maọbụ ịgụ agụmagụ Igbo. Emeyọnụ (1982) kọwara na ndị Igbo ka tinye uchu n'ọmụmụ asụsụ bekee karịa asụsụ ha. Enweghị mmasị idepụta nakwa ịgụ akwụkwọ agụmagụ n'Igbo mere ka agụmagụ ederede Igbo tụmadị ejije ghara itopụta n'oge.

N'agbanyeghị na ejije ọdịnaala Igbo apụtaghị n'oge ka Iduuazi Igbo maọbụ ka ejije ederede agbụrụ ndị ọzọ, e weela ọtụtụ akwụkwọ ejije Igbo ugba. Ndepụta ejije Igbo malitere n'afọ 1974. N'ime afọ ahụ, A.B. Chukuezi depụtara *Udo Ka Mma*; Mezu, S. O. depụta *Ụmụ Ejima*. Mmadụ abụọ ndị a amụghị maka asụsụ Igbo. E mechara ndị mụrụ asụsụ Igbo dịka G.O Onyekaọnwụ na Nwadike, I.U. sonye na ndepụta ejije Igbo. Ugbu a, e nweela akwụkwọ ejije Igbo karịrị iri asatọ n'ọnụọgụgụ. Tebul 1.0 na-ezipụta akwụkwọ ejije Igbo e derela malite n'afọ 1974 rue n'afọ 2020.

**Nnwale onwe 2**

1. Kedụ ihe atọ chere ejije ederede Igbo aka mgba?

2. Olee afọ e bipụtara akwụkwọ ejije Igbo mbụ?

3. Kedụ aha akwụkwọ ejije Igbo mbu e bipụtara?

### 3.3 Nkenụdị ejije ederede Igbo

Ụdị ejije ederede Igbo e nwere gụnyere:

### A. Ejije ọdachi (Tragedy)

Ejije ọdachi bụ ụdị ejije a na-ezipụta ndọkọrịta n'etiti isiagwa/dike na ike maọbụ ihe karịrị ya nke na-emecha merie ya. Ike maọbụ ihe ahụ karịrị isiagwa/dike na-abụkarị akaraaka (fate) ya. E kwenyere na onye ọbụla nwere akaraaka ya nke na-edu ya na ndụ. A na-asị na akaraaka mmadụ dị mma maọbụ ndị njọ. Onye akaraaka ya dị mma na-ebi ndụ tọrọ atọ ma ndụ onye akaraaka ya adịghị mma na-ezute ọdachi. Ọnwụnwa na-adakwasa onye akaraaka ya adịghị mma maọbụ onye chi ọjọọ ma merie ya. Ṅ'ejije, isiagwa akaraaka ya adịghị mma na-ezute ọdachi site na ntụpọ agwa, nkahie maọbụ anya erughi ala. Agwa nọ n'ejije na-enwere ọnọdụ ka mmadụ. Mmadụ anaghị ezu oke. Ụdị ezigbo omume sọrọ mmadụ ya nwee, ọ ga-enwerịrị ihe rụrụ ya maọbụ ebe o riri mperi. Omume maọbụ akparamagwa rụrụ agwa bụ ntụpọ agwa (harmatia) ya. Ntụpọ agwa na-abụkarị ebumpụtaụwa (congenital). Ọ naghị abụ ihe agwa mụtara amụta n'ihi ya, ọ naghị akpacha anya eme omume ahụ. Omụmaatụ ntụpọ agwa bụ iwe ọkụ, nganga hubris, ka a matachaa maọbụ ka a hụtachaa (inquisitiveness), enweghị egwu (fearlessness), akaghị obi (fearfulness) obi ebere (mercifulness/kindness) dgz. Nkahie (error in judgement) bụ mgbe agwa jehiere n'ikpe. Ọmụmaatụ, e nwere ike inye isiagwa ngwugwu abụọ ka ọ họrọ otu n'ime ha. Otu ngwugwu ga-eji ihe ga-egbu ya ebe ngwugwu nke ọzọ ga-eji ihe ga-azọpụta ya. Ọ ga-akahie, gaa were nke ga-egbu

ya. Ọmụmaatụ ọzọ bụ isiagwa/dike i zute ebe ụzọ gbara abụọ. Nke dị n’aka nrị abụrụ ụzọ ndụ, nke dị n’aka ekpe abụrụ ụzọ ọnwụ. Dike ahụ akahie, soro ụzọ gara aka ekpe nke ga-ebutere ya ọnwụ. Anya erughi ala (lack of vision) bụ agwa ejighi ire ya gụọ eze ya ọnụ maọbụ akpakọghị onwe ya ọnụ. Agwa anya erughị ala bụ onye na- eji aka ya daba n’ọdachi. Otu, abụọ maọbụ atọ n’ime ihe ndị a (ntụpọ agwa, nkahie na anya erughi ala) nwere ike ibutere isiagwa ọdachi. Ihe butere dike ọdachi ka a na-akpọ ntụpọ ọdachi (tragic flaw).

Isiagwa maọbụ dike n’ejije ọdachi na-adị ụzọ abụọ - dike zutere ọdachi (tragic hero) na ofeke dike (anti-hero). Dike zutere ọdachi bụ agwa na-ezute ọdachi n’ihi na ọ na-achọ ọdimma agwa ọzọ maọbụ ọhaneze ebe ofeke dike bụ agwa zutere ọdachi ebe ọ na-achọ ọdịmma nke onwe ya. Ndịiche dị n’etiti ofeke dike (anti-hero) na ndọrọ dike (villain) bụ na ofeke dike na-akpa ezi agwa ma na-enyekwara ọhaneze aka mana ndọrọ dike na-akpa ajọ agwa ma na- emekpa ọhaneze ahụ. N’otu aka ahụ, ndịiche dị n’etiti dike zutere ọdachi na ofeke dike bụ mbunuche ha. Ha abụọ na-egbo mkpa dị iche iche ma dike zutere ọdachi na-eme ihe ndị ahụ maka ọdimma onye maọbụ ndị ọzọ ebe ofeke dike na-eme ya maka ọdịmma onwe ya mana ndị ọzọ ga-erite uru site n’emereme ya.

**Njirimara ejije ọdachi**

1. Ọ na-akọ akụkọ maka nharịpụ dike maọbụ odogwu a ma ama ma na-asọpụrụ n’obodo. Ụfodụ oge, agwa a na-akọ maka ya na-abụ mmadụ nkiti. Ọmụmaatụ, Aworọ bụ di mgba a na-asọpurụ maka ike ọ na-akpa nakwa ugwu ọ na-ewetere obodo ya.

2. Isiagwa imehie, ịkahie maọbụ ileghara ihe anya na-ebutere ya ọdachi. Ọdachi na-adakwasa isi agwa na-abụkarị, ọnwụ, nchụpụ n’obodo (banishment) maọbụ imenye ihere (disgrace). Ọmụmaatụ, Awọrọ bụ amaghị ama tụwa nwa ya ime na ịlụ nwa ya bụ ihe butere ya ọdachi.

3. A na-enwe ndagharị ọnọdụ. Na mbido, ihe na-agara isiagwa nke ọma mana na ngwụcha, ihe ga-adagharị jọọrọ ya njọ nke ukwu. O nweghịkwa ihe ọ ga-eme ka ọnọdụ ya gbanwee ọzọ. Ndagharị ọnọdụ na-esite na mmata (peripety/peripeteia). Mmata bụ mgbe isiagwa ghọtara ebe mmiri si batara ya n’opi ugbọgụrụ. Ọ na-akwa arịrị na ngaramara (catharsis) maka nkahie, mmehie maọbụ nleghara anya ya. Ịmaatụ, Awọrọ zutere ndagharị ọnọdụ. na mbido, ihe niile na-agara ya nke ọma, ude ya na-ede n’obodo, ụmụnwaanyị na-achụ ya. Mana nkahie o mere nke bụ ilu na ịtụwa nwa ya ime mere ka o si n’ebe dị elu kpụọ afọ n’ala. E nwere mmata mgbe Aworo chọpụtara arụ ọ mere. ọ kwara ngaramara ma gbuo onwe ya.

4. Ọ naghị enwe mgbakwunye nhazi (sub-plot). Akụkọ dị n’ejije ọdachi na-aga n’usoro. A naghị enwe ‘ewetaetii’ na ya. A naghi enwe ncheta ihe merela (flashback) maọbụ ọhụụ ihe ga-eme n’ọdịniihu (foreshadowing). A naghịkwa akọ akụkọ agwa ọzọ. Emereme niile na-ehiwe isi na ndụ na obibi ndụ isiagwa/dike.

5. Mmetụtaobi ndị nkiri na-enwe bụ mwute na egwu. Ịmata na ihe isiagwa/dike na-agabiga abụghị nke o ji aka ya butere onwe ya kama ọ bụ akaraaka ya ka ọ na-eme, na –eme ka ndị nkiri na-emechitere ya ebere. N’otu aka ahụ icheta na ọnwụnwa ahụ biakwutere ma merie isiagwa nwekwara ike ịbịakwute ma merie ha na-eme ka egwu bịa ndị nkiri n’ahụ.

6. Ejije ọdachi na-ezipụta ihe ndị dị ike a na-ekwesighị ịkpa ọchị banyere ha.

**Nnwale onwe 3**

1. Kọwaa ejije ọdachi n'uju.

2. Kedụ ụdị agwa a na-ahụta n'ejije ọdachi?

3. Olee mmetụtaobi abụọ ndị nkiri na-enwete n'ejije ọdachi?

4. Depụta ma kọwaa njirimara ejije ọdachi atọ.

**B. Ejije Mkpaobiọma (Comedy)**

Ejije mkpaobiọma bụ ụdị ejije a na-ezipụta ihe siri ike ka ọ dị mfe. Ejije mkpaobiọma na ejije ọdachi nwere ike ilebanya n'otu isiokwu, mana usoro nzipụta isiokwu ahụ agaghị abụ otu. Ejije ọdachi ga-eme ka ndị mmadụ hụta ihe ndị siri ike maọbụ dị njọ nwere ike isite n'ọnọdụ maọbụ emereme dapụta mana, ejije ọdachị ga-eme ka ahụta ihe ntọọchị sitere n'ọnọdụ na emereme ndị ahụ dapụta. Echiche kwadoro ejije mkpaobiọma bụ na ihe ọma na-adị n'ọnọdụ ọbụla mmadụ hụtara onwe ya. Ezeaku (2014), kọwara na naanị ihe kewapụtara ejije ọdachi na ejije mkpaobioma bụ na ejije mkpaọbioma, mwute na egwu ọtụtụ adịghị adịgide. A na-emepụta emereme n'ụdị na uche ndị nkiri ga-apụ n'ihe ndị ga-ewetere ha mwute maọbụ egwu. Nke a pụtara na ọ bụ usoro mmepụta (performance) na mmetụtaobi ndị nkiri na-enwe, bụ ihe kewapụrụ ejije ọdachi na nke mkpaobiọma. Ndị omee were ike ịhịgharị emereme dị n'ejije ọdachi ka ọ tọọ ọchị ma hịharịkwa emereme dị n'ejije mkpaọbi ọma ka o weta egwu ọtụtụ. N'otu aka ahụ ndị nkiri weta mwute maọbụ egwu n'ejije mkpaobiọma, ọ họọ ejije ọdachi; ha weta aṅụrị maọbụ hụta ihe na-akpa ọchị n'ejije ọdachi, ọ họọ ejije mkpaobiọma. Nke a pụtara n'ihe na-eme ejije ka ọ bụrụ nke ọdachi maọbụ mkpaobiọma bụ etu ndị omee si zipụta emereme nakwa mmetụta ndị nkiri wetere site na nzipụta ndị omee. N'ejije mkpaobiọma, a na-agbachapụ n'etu ndụ na obibi ya si dị site n' ịkpachara anya mee ka emereme dachaa n'usoro ekere ha (to deviate from natural order ). Na ndụ, a na-agbarụ ihu ma mmadụ na-ezuzu ezuzu maobụ daa iberibe mana n'ejije mkpaobiọma, a na-eme ka mmadụ jiri anya ọma hụta nzuzu na iberibe.

N'agbanyeghị ụdịdị ya niile, ejije mkpaobiọma bụ enyo e ji ahụta maọbụ agba iberibe na nzuzu mmadụ n'anwụ site n'iji, anya mkparị/nkọcha, ịkwa emu, maọbụ ntọọchị.

**Ụdị ejije mkpaobiọma dị iche iche**

**a) Kọmedi nghọtahie (comedy of errors)**

N'ụdị ejije mkpaobiọma a, a na-enwe ihe ntọọchị sitere na nghọtahie n'etiti otu agwa na agwa ọzọ. Nne nwere ike ma ya amataghị nwa ya maka mgbanwe n'ọdịdị maọbụ ekike nwa ya. E were ike ibuli agwa ọnọdụ ya dị ala n'ọnọdụ dị elu n'ihi na e chere na ọ bụ onye ọ bụghị. Ndị omee anaghị ama maka nghọtahie ha mana ndị nkiri na-ama maka nzuzu ha nke na-akpa ha ọchị. Ọmụmaatụ, n' *Ajọ Obi*nke Nwaozuzu, e nwere nghọtahie ebe Oti na nne ya ukwu, Obịageli enweghị ike ịkpa oke site n'olu di ya na nke Onyema. Mgbe ụjọ ji ha abụọ ka ha nụrụ olu Onyema, ndị ọgụụ maobụ ndị nkiri ga-achị ọchị maka nghọtahie ha.

**Kọmedi akparamagwa (Comedy of manners).**

N’ụdị ejije a, omee maọbụ ndị omee na-akaje akparamagwa ndị ọgaranya maọbụ ndị ọkwa ha dị elu n’ọhaobodo. A na-akaje etu ha si aga ije, ekwu okwu, eri nri na mmegharị ahụ dị aṅaa ha na-eme. A na-akajekwa ejiji na etemete ha. akụkọ kọmedi akparamagwa na-abụkarị nke na-ezipụta onye ọkwa ya dị ala na-achọ ka o mewe ka ndị ọkwa ha dị elu. Ntọọchị n’ụdị ejije a na-esite na mmegheri onye ahụ na-achọ ime ka ndị ọzọ maọbụ ngosipụta akparamagwa ndachara n’ụzọ e si eme ihe. *A maghị Igbo asụ Oyibo,*nke C. J. Okeke bụ ọmụmaatụ kọmedi akparamagwa.

**Komedịmkpaọchị (Comedy of humours)**
Onye kepụtara ụdị ejije mkpaobiọma a bụ Ben Johnson n’oge agbata agụmagụ nke Elizabeth. Kọmedi mkpaọchị sitere n’atụtụ nkọwa omume mmadụ nke kwuru na e nwere ụdị mmadụ anọ gbara ọkpụrụkpụ. Sangwaini (sanguine) bụ ndị na-ekwu ọtụtụ okwu mana ha anaghị eme ihe ha kwuru; kọlerik (choleric) bụ ndị ewekarị iwe ma wee mụọ oke ọchịchọ, melakọli (melancholic) bụ ndị ihe na-ewute nke ukwuu ebe flegmatiki (phlegmatic) bụ ndị na anaghị achọ mgbakasi ahụ. N’ejije mkpaọchị, a na-ezipụta njirimara otu n’ime ụdị mmadụ anọ ndị a e were. N’agbanyeghị na *Jụọ Obinna* nke Ubesie bụ akụkọ, a ji ya nye ọmụmaatụ. N’akụkọ ahụ Obịnna bụ sangwaini n’ihi na ọ na-etu ọnụ mana ọ bụ onye ụjọ. nke a mere na okwu ọnụ ya na emereme ya anaghị adakọrịta. Ịmaatụ, Obinna kwuru na ya ga-alụ agha ma gbute ọtụtụ isi man aka agha suru, Obinna mere ọtụtụ ihe ka o wee gbanahụ ịpụ ihu agha. Ntọọchi na-adị n’ụdị ejije a na-esite na-nzipụta ndịiche dị n’etiti ihe agwa chere maọbụ kwuru na ihe o mere. Ọ na-esitekwa na nzipụta njirimara ụdị mmadụ nke ọbụla.

**Kọmedi nkọcha (Comedy of satire)**

Dị ka aha ya si dị e ji ụdị ejije akọcha ndị ọchịchị maọbụ iwu, nkwenye na echiche na-emekpa ndị mmadụ ahụ n’ụzọ njakịrị. Ịpụta kọchaa onye ndu maobụ iwu ya nwere ike ibutere mmadụ ntaramahụhụ dị iche iche dịka ije nga maọbụ ọnwụ. A na-esite n’ejije kọmedi nkọcha katọọ ihe ndị nọ n’ogo di elu na-eme na adaghị iwu ọbụla. Cheta na e kwuru na ọ bụ naanị n’ejije ka mmadụ nwere ike ịṅomi agwa mmadụ ma jijee akparamagwa ya n’adaghị iwu ọbụla. Nzipụta emereme n’ụzọ na-akpa ọchi na-eme ka ọ ghara ịbụ mkparị ka a na-akparị onye a na-akọcha kama ka ọ bụrụ ntuziaka ka a na-enye ya. Ụdị ejije a na-akụzi ihe site n’iji e kwuo ọzọ, e mee ọzọ (irony). Ọmụmaatụ ụdị ejije a bụ *Okwe Agbala* (Inno U. Nwadike) na “Akụụwa”*’*dị *n’Egwuruegwu Igbo Abụọ* (B.I.N Osuagwu).

**Kọmedi ọkwụ /ihunanya (Romantic comedy).**
Nke a bụ udị ejije mkpaobiọma na-akọ akụkọ nwoke na nwaanyị hụrụ onwe ha n’anya. Mmadụ abụọ ndị hụrụ onwe ha n’anya na-agabiga nhịaahụ dị iche iche tupu ha abụọ emechaa lụọ onwe ha ma bịrị n’aṅụrị ụwatụụwa. Ndị nkiri aanaghị enwe mwute n’ihi nhịaahụ dị iche iche mmadụ abụọ ahụ na-agabiga dịka n’ejije ntọmufu kama, mbọ dị iche iche ndị ahụ hụrịtara onwe ha n’anya na-agba ka ha nwere onwe ha, na-akpa ndị nkiri ọchị. Ọmụmaatụ ejije ọkwụ/ihụnanya bụ *Eruru* (G.I. Nwaozuzu).

**Soromchịa (Farce)**

Nke a bụ ụdị ejije kpaobiọma nke na-eme ka ọchị na-akụ ndị nkiri isi n’ala oge a na-ekiri ya. A na-enwe ọtụtụ nzuzu na nghọtaghị n’ime ya. Nhazi akụkọ ya anaghịkwa enwe ezi usoro. Ọ na-anabata ewetaetii nke ukwu. Ndị omee na-eme ihe ọbụla iji mee ka ọchị tọọ ndị nkiri nke ukwuu. Soromchịa

na komedi nghọtahie na enyi ha mana ndịiche dị n'etiti ha abụọ bụ na ndị nkiri na-akwacha amụ na soromchịa ma ha na-amụ amụ obere obere na komedi nghọtahie.

**Njirimara ejije mkpaobiọma**

1. A naghị ejije isiokwu, agwa na akparamagwa hiwere isi na ntọala n'akụkọ dike n'ejije mkpaobiọma. Ihe kpatara nke a bụ na ntọala na akụkọ dike na-hiwe isi n'ekpemekpe. Ọbụghị na e nwere iwu ji ndị odee maọbụ ndị omee itinye anya n'isiokwu ndị a, kama ekpemekpe ndị mmadụ bụ nkwenye ha. Nzipụta nkwenye ndị mmadụ n'ụzọ na-akpa ọchị bụ mkparị. N'ihi ya, e jighị ike ejije ihe gbasara ntọaja na akụkọ dike n'ejije mkpaobiọma. Ejije mkpaobiọma na-ejije ihe dị asọ maọbụ ihe a na-akwenyere ugwu ka a na-akpọ ejije mkpaobiọma- ọchịchịrị (Dark comedy).

2. A na-enwekarị mgbakwunye nhazi (sub-plot) n'ejije mkpaobiọma. Ejije mkpaobiọma na-akọkarị akụkọ agwa ndị ọzọ na-abụghị isiagwa. A na-ahụta ncheta ihe merela na nrụgara aka ihe ga-eme n'ọdịnịịhụ. nke a pụtara na usoro nhazi ejije mkpaobiọma na-abụ nke ewetaetii.

3. Ọ na-ejupụta na ntọọchị. A na-ezipụta ntọọchi site na nhọokwu, olu na mmegharị ahụ. Atụmatụokwu dịka egbeokwu (hyperbole/exaggeration), ekwuecheọzọ (irony) na igbuduokwu (paradox) na-apụtakarị ihe. Ndị omee na-esite na ngweolu ha nakwa mmegharị akụkụ ahụ ha dị iche iche n'ụzọ dị aṅaa wee zipụta ntọọchị n'ejije mkpaobiọma.

5. Ịchị ọchị maọbụ ịmụ amụ bụ mmetụtaobi kacha apụta ihe n'ejije mkpaobiọma. Ọ bụrụ na ndị nkiri anaghị adapụ n'ọchị mgbe ngosipụta ejije na-aga n'ihu, a mara ndị omee anaghị eme nke ọma. Metụtaobi ọzọ ndị nkiri na-eweta bụ aṅụrị. onye ọbụla na-ekiri ejije mkpaobiọma kwesịrị ichefu nsogbu ya oge ahụ.

6. Isiokwu ejije mkpaobioma na-agbadokarị ụkwụ n'ọnọdụ na-esite na nkahie onye mmadụ bụ (mistaken identity), na nghọtahie na-adị n'etiti mmadụ abụọ maọbụ karịa.

**Nnwale onwe 4**

1. Gịnị bụ ejije mkpaobiọma?

2. Depụta ụdịdị ejije mkpaobiọma anọ.

3. Kedụ ndịiche dị n'etiti kọmedi nghọtahie na nke ọkwụ/ịhụnanya?

4. Kedụ ụdị agwa a na-ahụ n'ejije mkpaobiọma?

5. Olee ndịiche dị n'etiti ejije ọdachi na ejije mkpaobiọma?

**Ch. Ejije Ntọmụụfụ (Traji-comedy)**

Nke a bụ ụdị ejije a na-agwọkọrịta mmebere ejije ọdachi na mkpaobiọma ọnụ. N'ụdị ejije a, isiagwa na-enwe ọtụtụ ihe ụfụ mana na ngwụcha, ọ na-emeri ọnwụnwa dakwasara ya. Ejije ntọmụfụ bụ ejije ọdachị na-ejedebe na mkpaobiọma. Nhazi ejije ntọmụfụ bụ ihe na-ekewapụta ya n'ụdị ejije ndị ọzọ. Ọ na-agbaso ọtụtụ usoro nhazi. Usoro nhazi ejije ntọmụfụ nwere ike ịgbasọ dị na tebul 1.0

Tebul 1.0

| **Mbido** | **Etiti** | **Ngwụcha** |
|---|---|---|
| Ihe ụfụ | Ihe ụfụ | Ihe ọṅụ |
| Ihe ọṅụ | Ihe ụfụ | Ihe ọṅụ |
| Ihe ụfụ | Ihe ọṅụ | Ihe ọṅụ |

E lee anya na tebul dị n'elu, a ga-ahụ na n' ejije ntọmụfụ, isiagwa nwere ike ịnọ n'ezi maọbụ ajọ ọnọdụ na mbido ejije. Ezi maọbụ ajọ ọnọdụ a nwere ike ịgawanye n'ihu maọbụ gbanwee n'etiti ejije. Na ngwụcha, isiagwa na-anọ n'ezi ọnọdụ. Isiagwa na-agabiga ọtụtụ mkpagbu mana na njedebe, ihe niile adabara ya. Ọtụtụ ejije ederede Igbo bụ ntọmụfụ. Ịmaatụ, Obidiya, Nkemjika, Okwe Agbaala, Nwaanyị bụ ihe ukwu dgz. N'ejije ndị a, isiagwa na-enweta mmegbu na mkpagbu dị iche iche na mbido mana n'ikpeazụ, o nwete mmeri ma turu ugo.

**Njirimara ejije ntọmụfụ**

1. 'Mmeri ezi omume' (triumph of good over evil) na-abụkarị isiokwu ya. N'ejije ntọmụfụ, ọ na-adị ka onye ajọ omume a na-emeri onye ezi omume na mbido mana na ngwụcha, onye ezi omume na- enwe emeri ebe onye ajọ omume na-anata ntaramahụhụ. Ịmaatụ, n' Obidiya, ihe niile nọ na-agara Oriakụ bụ onye ajọ omume nke ọma mana n'ikpeazụ, o zutere ọnwụ n'aka ndị na-egburu ya ndị mmadụ. Obidiya gabigara ọtụtụ ọdachị ọ kachasị ọnwụ di ya; n'ikpeazụ, o nwere mmeri site n'ọnwụ Oriakụ.

2. Ọnọdụ isiagwa na-agbanwe site na njọ banye na mma. Isiagwa nwere ike izute ihe ọma maọbụ ihe ọjọọ na mbido mana na ngwụcha, ọ ga-enweriṛị mmeri. Ejije ntọmụfụ dịka nke ọdachi anaghị anabata ewetaetii. A naghịkwa enwe mgbacha (deviance). Nke a pụtara na anaghị akọnyere isiakụkọ ejije akụkọ ọzọ.

3. Ọdachi na-adakwasa isiagwa anaghị esi ya n'aka. Ọdachi na-adakwasa isiagwa na-abụ nke ndọrọ isiagwa na-ezitere ya maka ọchịchọ nke obi ya. Ịmaatụ, Oriakụ gburu di Obidiya ka o wee naghara ha ala ha ma lụwa Obidiya. N'ejije ọdachi, ajọ ihe na-eme isiagwa na-abụ akaraka ya maọbụ ihe o ji aka ya butere onwe ya, mana n'ejije ntọmụfụ, aka isiagwa na-adị ọcha.

4. A na-enwe ngwakọrịta mmetụtaobi a na-eweta n'ejije ọdachi na ejije mkpaobiọma. N'ejije ntọmụfụ, mmetụtaobi ndị nkiri na-adagharị dịka ọnọdụ isiagwa na-adagharị. A na-enwe mwute na egwu mgbe ọdachi dakwasara isiagwa. A na-enwekwazị aṅụrị, obi ụtọ, nkudata ume na ịchị ọchị mgbe ihe ọma meere isiagwa.

**Nnwale onwe 5**

1. Kọwaa ejije ntọmufu n'uju.

2. Kedụ ndịiche dị n'etiti ejije ntọmufu na nke ọdachi?

3. Kedụ njirimara ejije ntọmufu anọ ị maara?

4. Kọwaa usoro nhazi ejije ntọmufu were ike ịgbaso.

**Ejije ogbi /Mmegharịahụ (Pantomime)**

Dịka aha ya siri kọwapụta, ejije ogbi bụ ụdi ejije enweghị ekwumekwu na ya. A na-eji oke mmegharị akụkụ ahụ dị iche iche dịka ihu, anya, ntị, ukwu, aka dgz, egosipụta mbunuche. A na-esitekwa n'emereme dịka ịnọ maọbụ itukwu ala, ịga ije, ịgba ọsọ, ikwe n'isi dgz akọ akụkọ. A na-ahụkarị ụdị a na tiivii ma ọ bụ n'elu nkwago. E nweghị ike ide ya ede ma ọ bụ bipụta ya, dị ka e nwere ike ime ụdị ndị ọzọ.

**Ejije egwu/Ngori (Melodrama)**

Nke a bụ ejije a na-enwe ọtụtụ egwu n'ime ya. A na-eji egwu akpalite mmetụtaobi n'ime ndị nkiri. Mbunuche ụdị ejije a bụ ịkpalite naanị otu mmetụtaobi n'ime ndị nkiri. Mmetụtaobi nwere ike ịbụ aṅụrị, mwute, maọbụ ụjọ. Nke a mere na a na-ahazi emereme niile n'ụzọ ọ ga-eji zipụta mmetụtaobi a họọrọ. Ịhazi emereme ka e wee zipụta otu mmetụtaobi na-eme ka ụdị emereme a na-ahụta n'ejije egwu bụrụ nke na-enweghị ike ime na ndụ. Akụkọ ejije egwu na-abụkarị maka ọkwụ maọbụ ihụnanya. Dịka n'ejije kọmedi ọkwụ, a na-enwe nwoke na nwaanyị hụrịtara onwe ha n'anya nke ukwuu. Agwa nwoke maọbụ nwaanyị na-eme ihe itunanya dịka inye onye ọ hụrụ n'anya ego ya niile, ịwa agụ asaa, guo mmiri asaa iji mee ka ọdị n'obi ya bịakwute ya. Ụdị emereme a na-ahụta n'ejije egwu na-abụkarị ihe na-eme n'ụwa nrọ karịa n'ụwa mmadụ nke na mmadụ sowe ya maọbụ chọọ ka onye ọ hụrụ n'anya mee ka agwa nọ n'ejije, o nwee nsogbu.

### 3.4 Njirimara ejije ederede

E nwere ihe ndị kewapụtara ejije ederede na ngalaba agụmagụ ederede ndị ọzọ. Ihe ndị ahụ bụ njirimara ejije ederede. Ha gụnyere:

1. Emume na ihe nkiri (Acts and scenes). A na-edepụta ejije n'emume na ihe nkiri. Dịka e si edepụta iduuazị n'isi n'isi ma na-edepụta abụ n'nkeji na nkeji, ka e si edepụta ejije n'emume n'emume (acts). Emume bụ ihe ngosi gbara ọkpụrụkpụ n'ejije. Emereme ndị na-emejuputa otu emume na-agbakọ ọnụ ma zipụta otu eriri akụkọ. A na-ekewa emume nke ọbụla n'ihe nkiri n'ihe nkiri (scenes) dịka e si ekewa isi ọbụla n'ọgbara n'ọgbara (paragraphs) n'iduuazị. Ihe nkiri bụ mgbanwe ntọala ebe, ọnọdụ maọbụ oge n'emume ọbụla. E ji mmechi na mmeghe akwa mgbochi ezipụta njedebe na mbido ihe nkiri ọbụla. Ịmaatụ, n'otu emume, ntọala ebe emereme nke mbụ nwere ike ịbụ n'okporo ụzọ ebe ntọala ebe emereme na-eso ya abụrụ n'ime ụlọ. E gosichaa emereme n'okporo ụzọ, e mechie akwa mgbochi ma hazie elu nkwago ka o ziputa ime ụlọ bụ ntọala ebe emereme ọzọ. A ga-emeghe akwa mgbochi ma gaa n'ihu mepụtawa emereme. Etu a ka ọ dịkwa na nzipụta ntọala ndị ọzọ. oge ọbụla e were mgbanwe na ntọala, e nwee ihe nkiri. Otu emume nwere ike inwe ihe nkiri abụọ maọbụ karịa.

2. Ejije ederede bụ agụmagụ. Ejije were ike ibụ ihe ngosi maọbụ agụmagụ. Ejije ederede bụ agụmagụ nke ndị e bu ndị ọgụụ n'uche wee dee. N'agbanyeghị nke a, e nwere ike igosipụta ndịna akwụkwọ ejije n'elu nkwago. Ọmụmaatụ, *Nke M Ji Ka* nke G.I. Nwaozuzu na *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu* nke J.I. Obidiebube bụ akwụkwọ agụmagụ mana e mechara gosipụta ha n'elu nkwago.

3. A na-ede ya n'ụdị mkparịta ụka. Anaghị edeju ejije ihu akwụkwọ dịka e si eme n'iduuazị maọbụ n'etiti akwụkwọ dịka n'abụ. A na-ede ya n'ụdị otu agwa kwue, agwa ọzọ e kwunyere ya. Na

ndepụta ejije, a na-edepụta aha agwa, tinye akara kpọmkpọm (:) ma depụta ihe agwa ahụ kwuru. A na-edepụtakwa ntuziaka banyere ihe agwa mere n' italiks, n'ime akara mkpuchi.

4. A na-enwe ọtụtụ ekwurekwu/ekwumekwu n'ejije ederede. N'ejije ọdịnaala, a na-enwe ọtụtụ megharị ahụ karịa ekwumekwu mana, n'ejije ederede, a na-enwe ekwumekwu na mmegharị ahụ. N'otu aka ahụ, ejije ederede anaghị enwe keesirikọ dịka iduuazị na abụ n'ihi na agwa ọbụla na-azara ọnụ ya.

5. A na-ama onye maọbụ ndị odee. Ejije ederede abụghị nke ọha dịka nke ọdịnaala. Aha odee na-adị n'ihu akwụkwọ nakwa ogwe akwụkwọ. Onye ọbụla enweghị ikike ịkọpị maọbụ gosipụta ya n'elu nkwago na-anataghị odee ikike.

6. A na-ama afọ mbiputa ejije ederede. Ejije ederede adịghị ka ejije ọdịnaala a na-amaghị oge o ji malite. A na-ahụ afọ e ji depụta ejije n'ihu akwụkwọ nke abụọ n'akwụkwọ ejije ọbụla. Ịmata oge e jiri depụta ejije ga-enyere ọgụụ aka ịghọtawanye emereme dị n'ejije n'ihi na ọrụ agụmagụ na-ezipụta ihe na-eme na gburugburu odee tụmadị n'oge a na-edepụta ihe.

7. A na-ama ụlọọrụ mbipụta ejije ederede. Ọ bụ ndị ụlọọrụ mbipụta na- ahazi ma bipụta ejije ederede. Aha ụlọọrụ mbipụta akwụkwọ agụmagụ akwụkwọ ọbụla na-adị n'ogwe akwụkwọ ahụ nakwa na n'ihu akwụkwọ nke abụọ na azụ akwụkwọ. Ịmata ụlọọrụ mbipụta akwụkwọ na-enyere aka ịmata ndịiche dị n'etiti akwụkwọ abụọ nwere otu aha.

**Nnwale onwe 6**

1. Depụta ma kọwaa n'uju njirimara ejije ederede ise

**4.0 Mmechi**

Na yunit a, e lebara anya n'ejije ederede Igbo site n'ịkọwa mmalite ya, ụdịdị ya dị iche iche nakwa njirimara nke ọbụla. E kọwapụtakwara njirimara izugbe ejije ederede niile nakwa ọnọdụ ejije ederede Igbo n'oge ugbu a.

**5.0 Nchịkọta**

Ejije ederede Igbo bụ ọrụ nka onye Igbo depụtara n'asụsụ Igbo maka ndị Igbo. Ọ na-ezipụta echiche na nkwenye ndị Igbo.

N'afọ 1974 ka a malitere ndepụta ejije ederede Igbo site na ndepụta *Udo ka mma* na *Ụmụ Ejima* .

Ụdị ejije ederede e nwere gụnyere ejije ọdachị, mkpaobiọma, ntọmufu, soromchịa, dgz. Ụdị ejije nke ọbụla nwere ụdịdị na njirimara ya.

Ejije ederede nwere njirimara ya ndị gbadoro ụkwụ n'usoro ndepụta ya.

**6.0 Nnwale onye nduzi**

1. Kọwaa ejije ederede Igbo.

2. Depụta ma kọwaa ụdị ejije ederede anọ.

3. Depụta ma kọwaa ụdị ejije mkpaobiọma anọ ị maara.

4. Dee nkenke akụkọ banyere mmalite ejije ederede Igbo.

5. Kedụ ihe atọ chere ejije ederede Igbo aka mgba?

6. Depụta ma kọwaa njirimara ejije ederede ise.

**7.0 Nrụtụaka**


Abrams, M. H. & Harpham, G. G. (2012). *A glossary of literary terms* (10th ed.). Australia: Wadsworth Cengage Learning.

Akoma, I. E. (1977). *Obidiya*. Ibadan: Oxford.

Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature*. Lagos: Princeton..

Baker, A. L. (2001). Critical concepts: Characters and characterization. Retrieved from *https://www.k-state.edu/english/baker/english320/cc- character and characterization*.

Barnet, S. & Cain, W. E. (2000). *A short guide to writing abotu literature* (8th ed.). New York: Pearson Education.

Chukuezi, A. B. (1974). *Udo Ka Mma*. Ibadan: Oxford.

Cuddon, J. A. & Habib, M. A. R. (2014). *Dictionary of literary terms and literary theory*. New York: Penguin Reference.

Echeruo, M. J. C. (1982). The future of Igbo studies: A very modest proposal. In F.C. Ogbalu & E.N. Emmenanjo (Eds.), *Igbo language and culture 2* (pp.228-237). Ibadan: University Press.

Emenajo, E. N. (1982). What is creative literature? The case of Igbo. *Journal of SPILC*, 2(1), 35-46.

Emenanjo, E. N. (1987). Creative literature in African languages: The example of the Igbo. *Nka*, 1, 80-93.

Emenyonu, E. N. (1975).Who does Flora Nwapa write for? *African Literarture Today*, 7, 28-33.

Ezeaku, A. (2014). *Fundamentals of literature*. Awka: Fab Anieh

Forster, E. M. (1927). *Aspects of the novel*. Harmond-Sworth: Penguin

Fowler, R. (1978). *A dictionary of modern critical terms*. London: Rotuledge & Kegan Paul.

Goring, P., Hawthorn, J., & Domhnall, M. (2010). *Studying literature*. London: Bloomsbury Publishing

Kennedy, X. J. & Gioia, D. (2010). *Literature: An introduction to fiction, poetry and writing* (11th ed.). New York: Longman/ Pearson.

Kirszner, L. G. & Mandel, S. R. (2004). *Literature: Reading, reacting and writing literature* (5th ed.). Australia: Thomson Wadsworth.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Mcllrath, P. (1955). Stereotypes, types and characterization in drama. Educational Theatre Journal, 7(1), 1-10. Retrieved from *https://www.jstor.org/stable/3204181*. Accessed on 17/01/19.

Mezu, S. O. (1974). *Ụmụ Ejima*. Ibadan: Black Academy Press.

Murfin, R. & Ray, S. M. (1998). *The Bedford glossary of critical and literary terms.* Boston: Bedford/Martins.

Nchikogwa, J. O. (2008). *The essentials of literature*. Enugu: Abic Books.

Nwachukwu-Agbada, J. O. J., Omobowale, T., Ododo, S. E. & Adebiyi, K. (2014). *Exam focus: Literature in English for WAEC (WASSCE) and NECO (SSCE)*. Ibadan: University press.

Nwaozuzu, G. I. (2005). *Nke M Ji Ka*. Enugu: Format Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2009). *Eruru*. Enugu: Format Publishers.

Okeke, J. C. (2009). *Amaghị Igbo Asụ Oyibo*. Onitsha: Edumail publishers.

Okodo, I. (1992). *The study of literary terminology and appreciation*. Onitsha: Foot Marks.

Onyekaonwu, G. O. (1980). *Nwata Rie Awọ*. Ibadan: Oxford.

Ugonna, N. (1979). A brief survey of development of the Igbo novel. *Nsukka Studies in African Literature*, 2(1), 30-47..

Uzochukwu, S. (2012). *Nnyocha akanka*. Obosi: Pacific Correspondence College Press.

## Modul 3 Mmetụta dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo

Yunit 1 Ntulekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede

Yunit 2 Mmebere ejije ọdịnaala a na-ahụta n'ejije ederede Igbo

Yunit 3 Nnyocha akwụkwọ ejije Igbo ụfọdụ

### Yunit 1 Ntulekọrịta ejije ọdịnaala na ejije ederede

1.0 Mkpọlite

2.0 Mbunuche

3.0 Ndịna kpọm kwem

3.1 Myiri dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede

3.2 Ndịiche dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede

4.0 Mmechi

5.0 Nchịkọta

6.0 Nnwale onye nduzi

7.0 Nrụtụaka

**1.0 Mkpọlite**

Na modul nke mbụ, a kọwara ejije n’izugbe. Na nke abụọ, a kọwara na-ekewara ejije ụzọ abụọ; nke ọdịnaala na nke ederede. A kọwara nke ọdịnaala dịka ihe ngosipụta ọdịbendị nke na-esite n’aka fere aka ma kọwaa nke ederede dịka ọrụ nka nke edepụtara n’akwụkwọ ka ndị mmadụ gụọ. Na yunit a, a ga-atụlekọrịta ejije ọdịnaala na nke ederede iji tụpụta myiri na ndịiche dị na ha abụọ.

**2.0 Mbunuche**

Na njedebe ihe ọmụmụ a, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-enwe ike:

1. Ịkọwa myiri dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo

2. Ịkọwa ndịiche dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo

3. Ikwu etu ejije ederede Igbo si gbanye mgbọrọgwụ n’ejije ọdịnaala Igbo

**3.1 Myiri dị n’etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede**

N’agbanyeghị na usoro nzipụta ha diwaga iche, ejije ederede na nke ọdịnaala bụcha agụmagụ. N’ihi ya, e nwere ihe ndị jikoro ha ọnụ. Ihe ndị ahụ gụnyere:

1. Nzipụta nsirihụụwa/usoro ebimndụ: ma e mepụtara ya emepụta n’ihu ndị nkiri maọbụ e depụtara ya ka ndị ọgụụ gụọ, ejije igbo na-ezipụta nkwenye, echiche, nsirihụụwa nakwa usoro ebimndụ ndị Igbo. Ọmụmaatụ, ejije ọdịnaala dịka ejije mmọnwụ na-ezipụta nkwenye ndị Igbo banyere ndị nna nna ha nwụrụ anwụ. N’otu aka ahụkwa, ejije ederede dịka Ome Ihe Jide Ọfo, na-ezipụtakwa echiche ndị Igbo banyere ndụ na obibi ya.

2. Nkuzi akọnuche: Ejije ọdịnaala na nke ederede na-enwe ihe mmụta nyere ndị ọgụụ maobụ ndị nkiri. A na-esite na ngosipụta nkọkịrịkọ nakwa ejije mgba kụnye n'ime ọhaneze tụmadị ndị ntorobịa, mmụọ ịgbasi ike, inwe obi nakwa ichekwaba obodo. N'otu aka ahụ, ejije ederede dịka Nwata Rie Awọ, na-akuziri ọgụụ ọghọm dị na mmadụ ime nganga.

3. Njije na nn̄omi: ejije ọdịnaala n'ụdị ya niile nakwa nke ederede na-enwe njije nakwa nn̄omi n'ime ha. Ndị omee na-enwere ọnọdụ na ọdịdị mmadụ, mmuọ, anụmanụ nakwa ihe ndị enweghị ndụ. O nweghị agwa na-akpa akparamagwa nke ọnwe ya. Ịmaatụ, mmọnwụ dị iche iche na-enwere ọnọdụ ndị nna nna nwụrụ anwụ ma na-ejije ihe e chere bụ akparamagwa ha dịka etu ha si ekwu okwu, aga ije dgz. N'otu aka ahụ, n'ihu akwụkwọ nke atọ n'akwụkwọ ejije ederede, a na-enwe aha agwa na akparamagwa nakwa aha ndị omee nn̄omiri agwa na akparamagwa nke ọbụla; ma ọ bụrụ na-emepụtala ya na nkwago. Ịmaatụ, n'*Ifeatụ* nke J.I. Obidiebube, a hụrụ aha ndị nn̄ọmiri ma jijie agwa na akparamagwa dị n'ime ya ụ ejije.

4. Asụsụ: Na nkọwa ihe bụ ejije Igbo, e kwuru na ọ bụ ihe ngosipụta maọbụ agụmagụ nke e zipụtara maobụ depụtara n'asụsụ Igbo. A na-eji asụsụ Igbo ezipụta nakwa edepụta ejije Igbo. Igbo na-asụ n'olu n'olu n'ihi ya, e nwere olundị dị iche iche mejupụtara asụsụ Igbo nakwa Igbo izugbe bụ nke e ji akụzi ma na-amụ asụsụ Igbo. Obodo dị iche iche na-ejikarị olundị ha emepụta ejije ọdịnaala ha. N'aka nke ọzọ, ọ bụ Igbo izugbe ka e ji edepụta akwụkwọ Igbo. N'agbanyeghị maọbụ izugbe maọbụ olundi, ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji emepụta nakwa edepụta ejije Igbo.

5. Nnọrị oge: ejije ọdinaala na nke ederede bụ nke ndị nkiri na ndị ọgụụ ji anọrị oge. Ha na-enye ndị nkiri na ndị ọgụụ ezumiike n'ọrụ ha ma wepụ uche ha na nsogbu ha nwere oge ha na-agụ maọbụ ekiri ejije. Nke a pụtara na ejije ọdịnaala na nke ederede na-akụpụta mmetụtaobi n'ime ndị nkiri nakwa ndị ọgụụ.

6. Ndịna ha abụọ na-esite n'ihe na-eme na gburugburu. Ihe ndị a na-emepụta n'ejije ọdịnaala na nke ederede na-ehiwe isi n'ihe na-eme na gburugburu maọbụ ihe merela. Site na ha abụọ, a na-ezipụta akụkọala ndị. Ụfọdụ oge, a na-enwe arọrarọ n'ime ha n'ihi na ha abụọ bụcha ọrụ nka sitere n'echiche. Echiche ahụ anaghị esite n'ikuku kama ọ na-esite n'ihe na-eme nakwa ihe e chere nwere ike ime.

7. Nka: a na-eji nka emepụta mọbụ edepụta ejije ọdịnaala na nke ederede. Ndị omee na-eji nka sitere n'ekereuche ha wee mepụta emereme dị ihe ngosipụta maọbụ egwuregwu ha na-eme n'ụdị ga-achaba ndị nkiri n'anya. N'otu aka ahụkwa, ndị odee na-eji ekereuche ha rọzie ma depụta emereme n'ụdị ga-ebu ndị ọgụụ n'ụkwụ. Ọzọkwa, ndị omee ejije ọdịnaala na ndị odee ejije ederede na-enweta ọzụzụ maka imepụta nka ha. A na-akụziri ndị omee egwu, ịzọ ụkwụ na nka dị ọzọ dị mkpa na mmepụta ejije. N'otu aka ahụ, a na-enye ndị odee ọzụzụ banyere nhazi na nzipụta akụkọ n'ụzọ ejije nke na-enyere ha aka idema ọrụ ha.

**3.2 Ndịiche dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede**

E lebara anya n'ụzọ dị iche iche ejije ọdịnaala na nke ederede si yirite onwe ha. Ka o sila dị, e nwere ihe ndị kewapụrụ ha mere nke ọbụla jiri mpaghara agụmagụ nke ya. Ndịiche dị n'etiti ejije ọdịnaala na ejije ederede gụnyere:

1. Ọdịdị ha (form): ejije ọdịnaala na-adị n'ụdị ekwumekwu ebe nke ederede na-adị n'ụdị edemede. Nke a pụtara na a naghị edetu ejije ọdịnaala n'akwụkwọ mana a na-edetu ejije ederede n'akwụkwọ. A naghị anọ otu ebe ekiri ejije ọdịnaala n'ihi na e nweghị otu ebe a chịkọbara ya ọnụ mana a na-anọ otu ebe agụ ejije ederede n'ihi na-achịkọbara ya n'otu akwụkwọ agụmagụ. Ndịna ejije ọdịnaala na-agbanwe n'ihi na ọ na-esi n'aka fere aka. Mmadụ nwere ike itinye etinye maọbụ wepụ ewepụ. Mana ọ dighị etụ ahụ n'ejije ederede. N'ihi na e deturu ya edetu, ndịna ejije ederede anaghị agbanwe agbanwe. Ịmaatụ agbanweela ọtụtụ ihe a na-emebu n'ejije ọdịnaala dịka mmọnwụ ịpịa mmadụ ụtarị aghara aghara mana otu akụkọ dị n'*Udo Ka Mma* ka dị na ya site n'afọ 1974 wee rue taa. N'ihi ọdịdị ha, a na-ekiri ejije ọdịnaala ekiri ma na-agụ ejije ederede agụ. A hazie ma depụta ejije ọdịnaala n'akwụkwọ, ọ kwusị ịbụ ejije ọdịnaala, ọ bụziere ejije ederede.

2. Ndị e meebere ya (intended audience): E mebere ejije ọdịnaala maka onye ọbụla. N'agbanyeghị ogo mmadụ n'ọhaneze, ọ ga-ekiri ejije ọdịnaala mana ejije ederede bụ naanị maka ndị mara agụ asụsụ Igbo. Onye si mba ọzọ, na-amaghị asụ maọbụ aghọta asụsụ Igbo nwere ike ikiri ejije ọdịnaala ma gbaara anya ya ekeresimesi mana onye na-enweghị ọzụzụ n'ịgụ na ide asụsụ Igbo agaghị enwe ike ịgụpụta maọbụ ghọta ejije ederede Igbo.

3. Onwunwe (ownership): ejije ọdịnaala bụ nke ọhaneze nwekọrọ ọnụ. Otu onye maọbụ ndị enweghị ya. Ọ bụ ọdịbendị ọhaneze ọbụla mana ejije ederede na-abụ ihe otu onye maọbụ mmadụ ole ma ole nwee. Ịmaatụ, ejije mmọnwụ bụ ihe zuru mba Igbo niile ọnụ. O nweghị obodo, ndị maọbụ onye ga-asị na ọ bụ ya nwe ya mana ejije ederede dịka *Ọjaadịlị* bụ ọrụ aka ndị omenka Ọdunke. N'otu aka ahụkwa, *Nwata Rie Awọ* bụ Orụ nka nke G. O. Onyekaọnwụ. Imepụta, ntụgharị na nkọpị ndịna ejije ederede na-anaghị odee ikike bụ ịda iwu nke nwere ike iziga mmadụ nga; mana ilere anya, gbaziri ma mepụta ejije ọdịnaala n'usoro onye maọbụ ndị ọzọ si emepụta ya, adịghị n'iwu.

4. Usoro mmepụta (production process): ndị omee na-emepụta ejije ọdịnaala ebe ndị odee na-emepụta ejije ederede. Ka o sila dị, otu onye anaghị emepụta ejije ọdịnaala mana otu onye na-edepụta ejije ederede. Ịmaatụ, otu onye apụghị imepụta ejije mmọnwụ, mgba maọbụ nke ụmụaka mana otu onye pụrụ idepụta ejije ọdachi dịka G.O Onyekaọnwụ depụtara *Ọkụ Ghara Ite*, ejije ntọmụfụ dịka I. U. Nwadike depụtara *Okwe Agbaala.*Ọzọ, ndị omee na-enwe oge iji kwado ma mepụta egwuregwu ha mana ndị odee nwere oghere idecha mgbe ọ masịrị ha. Nke a bụ maka na ejije ọdịnaala na-apụtakarị ihe n'emume ofufe maọbụ emume ndị ọzọ nke nwere ụbọchị nakwa oge e ji eme ya mana, ejije ederede enweghị izu, ọnwa maọbụ ụbọchị a tụrụ any aka odee dechaa. Odee na-aka kpachapụ anya oge ọ na-edepụta ọrụ ya n'ihi na ọ ga-ahịa ahụ ma rie nnukwu ego ịgbanwe ndehie dị n'ọrụ ma e bipụtachaa ya mana ndị omee nwere oghere imezi mmehie ọbụla ha mere oge ha na-emepụta egwuregwu. Nke a pụtara n'ejije ọdịnaala na-anabata ma gbanwe ebe nke ederede anaghị eji ike anabata mgbanwe.

5. Oge mmalite: Ụfọdụ ndị ọkammụta agbaliala ikwu etu ha chere ejije ọdịnaala siri tolite mana o nwebeghị onye mara mgbe o bidoro. Nke a mere e ji ahụta ejije ọdịnaala dịka mpaghara omenaala nke ya na ndị Igbo bụ ọgbọ. N'aka nke ọzọ, ejije ederede Igbo bụ nke bidoro ka mmepe na teknọlọji pụtara. Ndepụta ejije n'asụsụ Igbo malitere n'afọ 1974. A makwara ndị ụlọọrụ na ebe mbipụta ejije ederede Igbo mbụ. Na ngwụcha modul a, e nwere tebulu na-egosi akwụkwọ ejije Igbo e depụtarala malite n'afọ 1974 rue 2020.

6.Nhazi: Dị̣ka agụmagụ ọnụ, a na-ahazi ejije ọdịnaala n' ụdị n'emume ọbụla ga-adị nkenke ka ọ nwee diri ndị mmepụta na ndị nkiri mfe ibu n'isi maọbụ ncheta. A na-emenwo emereme ndị e chere dị mkpa ugboro ugboro ka o wee debaa n'isi ndị nkiri. Mana n'ejije ederede, a na-edejupụta ihe a chọrọ ide nke ọma n'ihi na ọgụụ nwere oghere ịlọghachi azụ gụgharia emume maọbụ ihe nkiri na-edochaghị ya anya. Ọzọkwa, nhazi akụkọ n'ejije ọdịnaala na-abụ nke ewetaetii. Nke a pụtara na ọ naghị enwe otu eriri akụkọ jikọrọ emereme niile dị na ya onụ. N'aka nke ọzọ, ejije ederede na-enwe nhazi gbasoro ezi usoro nke na otu emereme na-akpata emereme ọzọ. Emereme niile dị n'ejije ederde na-enwe otu eriri akụkọ nke jikọrọ ha ọnụ.

8. Agwa na akparamagwa: ụdị isiagwa a na-ahụta n'ejije ọdịnaala bụ nke ọkwa maobụ ogo ha dị elu. Isiagwa n'ejije ọdịnaala na-abụkarị dike na ịnyọmike nwere ọnatarachi pụrụ iche mana ụdị agwa a na-ahụkarị n'ejije ọdịnaala bụ mmadụ nkịtị na-eme ihe ndị ọzọ na-eme.

3.3 **Etu ejije ederede Igbo si gbanye mgbọrọgwụ n'ejije ọdịnaala Igbo**

Tupu ọbịbịa ndị ọcha nke nwetere mmepe, ndị Igbo agba ochie na-esite na-akụkọ, egwu na egwuregwu dị iche iche echekwaba, akụziri ụmụ ha ma na-ezipụtakwa akụkọala, nkwenye, echiche, keesirihụ na usoro ebimndụ ha. A na-esite n'egwu maọbụ mbem kuziere ndị na-eto eto maka agbụrụ ha na ezinaụlọ ha (geneology). A na-esite n'akụkọ kuziere ndị na-eto eto iwu na-achịkwaba obodo, akparamagwa ndị a nabatara na ndị anabataghị nakwa akụkọala. A na-esitekwa na mmepụta ụfọdụ ihe ndị a na-akọ n'akụkọ kụziere ndị na-eto eto maka akpamiike, ịbụ odogwu ma kụnye n'ime ha mmụọ ịhụ obodo n'anya na ichekwaba obodo. N'ụzọ dị etu a, ọdịnaala ndị Igbo na-esite n'aka fere aka.

Ụzọ atọ ndị a e si ezipụta ma na-akụzi omenaala ndị Igbo ka a haziri ma kpọọ ha ngalaba agụmagụ atọ; akụkọ, abụ na ejije. Ndị na-akụzi akụzi na ndị a na-akụziri na adabere n'ibute ihe n'isi maọbụ ncheta. Nke a mere na ndị na-akụzi akụzi na ndị a na-akụziri na-echefu ihe ụfọdụ. Ụfọdụ mpaghara omenaala ndị Igbo na usoro nziputa ha efunyụọla anya n'ihi ụfọdụ ihe na-agbafu n'uche mmadụ. Ọbịbịa ndị ọcha nwere uru nakwa ọghọm nyere ndị Igbo. Otu n'ime uru ọbịbịa ndị ọcha wetere ndị Igbo bụ mmepe na teknọlọjị. Site na mmepe, e bidoro ịmụ, ide na ịgụ asụsụ Igbo. Sitekwa na teknọlọjị, e nwetere igwe na-ebipụta akwụkwọ. Ọgụgụ na odide asụsụ Igbo nyere aka ịhụ na e deturu echiche, nkwenye, keesirihụ na usoro ebimndụ ndị Igbo nke na-enweghị usoro nchekwa siri ike. Omenaala Igbo niile e deturu edetu gbakọrọ aka ọnụ mebe agụmagụ Igbo. N'agbanyeghị na e detuọla ha n'akwụkwọ, ndị Igbo ka na-agbasokwa usoro agba ochie ha ezipụta omenaala ha. Nke a mere e ji kewaa agụmagụ ndị Igbo ụzọ abụọ. Ndị edepụtaghị n'akwụkwọ maọbụ ndị na-agbaso usoro ekwurunọnụ ka a na-akpọ agụmagụ ọnụ ma na-akpọ ndị e deturu edetu, agụmagụ ederede. Nkọwa a na-arutu aka n'agụmagụ ederede si na nke ọdịnaala maọbụ ọnụ wee pulite.

Dịka o si metụta ejije Igbo, ejije ederede Igbo si n'ejije ọdịnaala wee tọlite. Ejije ọdịnaala n'onwe ya sitere n'akụkọ ọdịnaala tụmadị nkọmịrịkọ (myths) na nkọkịrịkọ (legends) wee tolite. Ejije ọdịnaala bụ njije maọbụ mmepụta emereme dị n'akụkọ. N'iji zipụta etu ejije ederede Igbo siri site n'ejije ọdịnaala topụta, a ga-agbado ụkwụ n'ụfọdụ mmebere ejije ọdịnaala ndị a na-ahụta n'ejije ederede.

**Mmebere ejije ọdịnaala ndị a na-ahụta n'ejije ederede**

1. Ndịna isiokwu: N'agbanyeghị na otu njirimara ejije ederede bụ na ọ na-ehiwe isi n'emereme a na-ahụta na ndụ karịa arọraarọ, ụfọdụ ejije ederede Igbo hiwere isi n'akụkọ arọraarọ maọbụ ihe ga-ahịa ahụ ịhụta na ndụ. Ọmụmaatụ, akụkọ dị n' *Eruru* nke Nwaozuzu na-ezipụta ihe na-eme n'ụwa nrọ karịa n'ala ihe. Ọmụmaatụ ọzọ bụ Ọjaadịlị. Akọmakọ dị n'Ọjaadịlị bụ nke metụtara ala mmadụ, mmụọ na anụmanụ nke mere ka ọ bụrụ ihe na-eme n'ụwa nrọ karịa n'ihe.

2. Ntọaja: N'ihi na ejije ọdịnaala na-esotekarị emume ofufe maọbụ emume ndị ọzọ, a na-enwe ntọala n'ime ya. A na-ahụta ụfọdụ ntọala ndị a dịka ịwa ọjị, ịra nzu, ịka ahụ maọbụ igwọ ọgwụ, ịgọ arụsị dgz, n'ejije ederede. Ọmụmaatụ, N' *Ifeatụ* nke Obidiebube, a hụrụ ebe eze na-agọ ọjị. N'otu aka ahụkwa, a hụrụ ebe a na-elekwara Awọrọ na Ọjaadịlị ọgwụ mgba ha na *Nwata Rie Awọ* na *Ọjaadịlị* n'otu n'otu.

3. Egwu: Ịgụ na ịgba egwu bụ mmebere ejije ọdịnaala nke na-apụta ihe n'ejije ederede. Ịmaatụ, n' *Obidiya* nke Akoma, e nwere ndị egwu. A na-esite n'egwu gbaa ama ihe merela maọbụ ihe nwere ike ime. Ọmụmaatụ, ọ bụ site n'egwu ndị ukwe ka e siri mata na Oriakụ egbuola mmadụ mgbe gara aga.

4. Ịgba mgba: Mgba bụ ụdị egwuregwu ọdịnaala. Emereme mgba ka e ji ezipụta ejije mgba. N'ọtụtụ ejije ederede Igbo, mgba na- apụta ihe. Ịmaatụ, na *Nwata Rie Awọ* na *Ọjaadịlị*, isiagwa nọcha na ha bụ ọkaamgba.

5.Agwa na akparamagwa: otu njirimara ejije ọdịnaala bụ na agwa ndị na-anọkarị na ya bụ agwa ndị ọkwa ha dị elu n'ọha obodo. Isiagwa na-abụkarị dike maọbụ inyomike dịka n'ejije dike na ejije mgba. Ejije ederede bụ nke e ji nzipụta agwa ndị ogbenye maọbụ mmadụ nkịtị wee mara mana ụfọdụ ejije ederede Igbo na-enwe isiagwa ndị bụ dike na inyomike. Ọmụmaatụ, Nwamaka n' *Otu Mkpịsị Aka* nke Mmadụekwe, Ijeọma n' *Oji Isi Kote Ebu* nke Eneore, Obidiya n'*Obidiya* nke Akoma, Awọrọ na *Nwata Rie Awọ* na Ọjaadịlị n' *Ọjaadịlị*dgz.

**4.0 Mmechi**

Ejije ọdịnaala na ejije ederede Igbo dịka agụmagụ ọnụ na nke ederede niile bụ aka ekpe na aka nri na-akwarịta onwe ha. Ejije ederede dịka agụmagụ ederede ndị ọzọ site na nke ọdịnaala wee pụlite. Naanị ihe doro anya kewapụrụ ejije ọdịnaala na nke ederede bụ ọdịdị maọbụ usoro nzipụta ha. A na-ekwu nke ọdịnaala n'ọnụ ma na-edepụta nke ederede n'akwụkwọ. A rụtụrụ aka n'ebe dị iche iche ejije ọdịnaala na nke ederede siri yite onwe ha nakwa ebe ha siri dị iche. Ejije ọdịnaala na nke ederede nwere mmetụta n'etiti ha nke pụta ihe site na njirimara maobụ mmebere ejije ọdịnaala ndị a na-ahụta n'ejije ederede. Mkpatara mmetụta a bụ na odee ọbụla na-agbakwasa ụkwụ n'ihe ndị ọ hụrụla, nụrụla nakwa ihe mere ya maọbụ na-eme na gburugburu ya wee depụta ọrụ nka ya. Ọ hịara ahụ ịhụ nwaafọ Igbo na-ekiribeghị egwuregwu ọdịnaala dị iche iche ndị Igbo.

**5.0 Nchịkọta**

Ejije ọdịnaala na nke ederede nwere mmetụta. Ejije ederede Igbo sitere na nke ọdịnaala wee pulite. Myiri dị n'etiti ejije ọdịnaala na nke ederede gụnyere asụsụ nzipụta ha, nzipụta nsirihụndụ na usoroebimndụ ndị Igbo, ịgbazinye akọnuche, dgz. Ndịiche dị n'etiti ha gụnyere ọdịdị maọbụ usoro nzipụta ha, nhazi ha nakwa ụdịdị agwa na akparamagwa dị na ha dgz. N'agbanyeghị ndịiche dị n'etiti ha, e nwere mmebere ejije ọdịnaala ụfọdụ a na-ahụta na nke ederede dịka ntọaja dịka ịgọ ọjị, egwu, ịgba mgba, dgz. A na-ekwu naanị maka mmetụta ejije ọdịnaala na nke ederede n'ihi na ejije ọdịnaala tọtara nke ederede.

**6.0 Nnwale onye nduzi**

1. Depụta ma kọwaa myiri anọ dị n'etiti ejije ọdịnaala nke ederede.

2. Depụta ma kọwaa ndịiche ise dị n'etiti ejije ọdịnaala na nke ederede.

3. Kọwaa n'uju mmebere ejije ọdịnaala atọ a na-ahụta na nke ederede.

4. Ejije ọdịnaala na-emetụta nke ederede. Jiri ọmụmaatụ gbahaa maọbụ kwado echiche a.

**7.0 Nrụtụaka**


Akoma, I. E. (1977). *Obidiya*. Ibadan: Oxford.

Akporobaro, F. B. O. (2012). *Introduction to African oral literature*. Lagos: Princeton..

Chukuezi, A. B. (1974). *Udo Ka Mma*. Ibadan: Oxford.

Cuddon, J. A. & Habib, M. A. R. (2014). *Dictionary of literary terms and literary theory*. New York: Penguin Reference.

Emenanjo, E. N. (1987). Creative literature in African languages: The example of the Igbo. *Nka*, 1, 80-93.

Eneore, W. (1982). *Oji Isi Kote Ebu*. Owerri: Longman.

Ezeaku, A. (2014). *Fundamentals of literature*. Awka: Fab Anieh

Maduekwe, J. C. (1993). *Otu Mkpisi Aka*. Owerri: Longman

Mbah, B. M. & Mbah, E. E. (2007). *Azuonye: Lectures on Igbo literature and stylistics*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Nchikogwa, J. O. (2008). *The essentials of literature*. Enugu: Abic Books.

Nnabuihe, B. C. (2009). Ndubanye n'ọmụmụ agụmagụ ederede Igbo. Jọnal Mmụta Igbo, 4(1) 82-90

Nwadike, I. U. (1991). *Okwe Agbaala*. Nigeria: Macmillian.

Nwadike, I. U. (1992). *Ntọala Agụmagụ*. Nigeria: Ifunaanya Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2005). *Nke M Ji Ka*. Enugu: Format Publishers.

Nwaozuzu, G. I. (2009). *Eruru*. Enugu: Format Publishers.

Obidiebube, I. J. (2013). *Ifeatụ*. Onitsha: Pacific Publishers

Obidiebube, I. J. (2015). *Nwaanyị Bụ Ihe Ukwu*. Onitsha: Pacific Publishers

Onyekaonwu, G. O. (1980). *Nwata Rie Awọ*. Ibadan: Oxford.

Onyekaonwu, G. O. (1987).*Ọkụ Ghara Ite*. Ibadan: Oxford.

Uzochukwu, S. (2012). *Nnyocha akanka*. Obosi: Pacific Correspondence College Press.

| **Aha akwụkwọ** | **Aha odee** | **Afọ mbipụta** | **Ndi mbipụta** |
|---|---|---|---|
| Udo ka mma | Anelechi. B. Chukuezi | 1974 | Ibadan:Oxford University |
| Ụmụ ejima | S. Ọ mezu | 1974 | Black Academy press |
| Ọjadịlị | Odunke Artist | 1977 | University press limited ibadan benin |
| Nwa Ngwii puo eze | B. I. N Osuagwu | 1977 | UPC |
| Obidiya | Eyinna S. Akoma | 1977 | Oxford |
| Uno àjà | Uche Okeke | 1978 | Lincel publishers |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Akụụwa | Dr. Brotram I. N | 1978 | Lagos: MacMillan Nigeria publishers |
| Egwuregwu Igbo abụọ | B. I. N Osuagwu | 1978 | MacMillan |
| Oguamalam | Çhïkë ọ site Gbujie | 1979 | Lagos: MacMillan Nigeria publsihers |
| Ákwá nwa | A. B. Chukuezi | 1979 | AUP |
| Echi dị ime | W. Eneroe | 1979 | MacMillan |
| Otu mkpịsịaka | J. C maduekwe | 1979 | Longman |
| Akụ fechaa | A. B. Chukuezi | 1980 | UPL |
| Ugomma | G. Echebima | 1980 | Evans |
| Obi nwanne | K. Okpi | 1980 | Evans |
| Nwata rie awọ | G. O. Onyekaonwu | 1980 | UPC |
| Ukoji | M. J. Okafo | 1981 | UPC |
| Ọkụ ụzụ daa ibube | G. O Onyekaonwu | 1982 | Longman |
| Oji isi kote ebu | W. Eneroe | 1982 | Longman |
| Eriri mara ngwugwu | G. O Onyekaonwu | 1985 | UPC |
| Ụwa ntọọ | G. O Onyekaonwu | 1986 | African Fep |
| Ọnụkwube | Odunke Artists | 1986 | UPL |
| Eziokwu bụ ndụ | M. U Anukwu | 1986 | Cecta |
| Onye chi kere eze | T. O. Okechukwu | 1987 | Cecta |
| Uchenna | S. N Agomoh | 1987 | UPC |
| Ọkụ ghara ite | G. O Onyekaonwu | 1987 | Iselberg |
| Ụwa dị ogbu | O. D Ibe | 1988 | Kawuriz & Manilas, obosi |
| Onye kpara nkụ ahụhụ | I. U Nwadike | 1989 | Kawuriz & Manilas, obosi |
| Ezinne | C. Anyasodo | 1989 | Longman |
| Adakụ | Obioma B. Mogbogu | 1989 | Pacific |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Omume onye na-edu ya | Inno Uzoma Nwadike | 1990 | Pacific publishers |
| Okwe agbala | Inno Uzoma Nwadike | 1991 | MacMillan |
| Ome ihe jide ọfọ | G. I Nwaozuzu | 1991 | MacMillan |
| Ojimba | A. Ubani | 1991 | UPl |
| Nwata bulie nna ya elu | I. U Nwadike | 1992 | Pacific |
| A gbachaa ọsọ a gụọ mailu | C. N. Chile | 1993 | Metropolitan |
| Oji ihe nwata | L. N Okoro & D. N Ekpuchie | 1995 | Charismatic Forum |
| Ogbu mmadụ ndụ na agụ | B. N igbokwe | 1995 | Ihem Davis |
| Ihe onye metara | G. Okeahialam | 1996 | Ihem Davis |
| Chi bụ ọgwụ m | C. N. Chile | 1996 | Metropolitan |
| Fịlamint na ndị otu ya | P. J. Ezeh (otughari) | 1998 | Noble publishers |
| Ajọ obi | G. I Nwaozuzu | 1998 | Format, Enugu |
| Akụebiọnwụ | D. N Ekpuchie & B. N igbokwe | 1998 | Studioart |
| Ịhụnanya | O. Azubike | 1999 | Joga |
| Ụwa ka mma na nrọ | Inno Uzoma Nwadike | 1999 | Format, Enugu |
| Ọnwụ na-egbu nwa nkịta | Anozie & igbeaku | 2001 | Filladu |
| Nkeiruka | G. N Echebima | 2001 | Heinemann |
| Ihe onye metere | N. Okediadi | 2002 | Unik oriental printers ltd |
| Ndụ dị na ntị | S. N Okafo | 2003 | Hybrid publishers Ltd |
| Ọgụgụọ | J. C onuora | 2003 | Patnomic printers & publishers ltd |
| Ọchọ ihe ukwu | J. C Onuora | 2003 | Patnomic |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Ọnụ akọrọ onye ụwa | Stella ogechukwu Agunwa | 2004 | Lincel publishers |
| Onye gara njem nyuchie nsị ụzọ | Millicient G. Asogwa | 2004 | Samuel publishing Co Enugu |
| Nkem ji ka | G. I. Nwaozuzu | 2005 | Format publishers Enugu |
| Iko onye ji ama | Stella ogechukwu Agunwa | 2006 | Lincel publishers |
| Atụrụ ga-epu mpi | Onyefuluchukwu | 2006 | New generation book ltd |
| Onye chi mere eze | E.N. Chukwu dike & I. G Chukwudile | 2006 | Thonik prints |
| Ọnọdụ ugo adịghị egbe mma | J. I. Obidiebube | 2006 | Lincel publisher |
| Ihe egbe mụrụ | J. C. Onuora | 2006 | Patmonic producers Ltd |
| Ihe Agwọ mụrụ | M. O Agugu | 2006 | Fidgina Global books |
| Ụwa dị ọkpara | Okeke Chika Jerry | 2007 | Edumail |
| Afere | J. C. Obienyem | 2008 | Samuel's publishers Co |
| Ndudo nneke na Azụanụụka | O. C ihejirika | 2008 | P. C. C & p ltd |
| Ka ị ma nke a… | Agụgụ M. O | 2008 | Metag Educational resources |
| Ụwa ọgwụgwụ oge | Uche ugwuoke | 2008 | Pacific publishers. |
| Nkịta nyara akpa nsị agwụ n'ọhịa | C. Okeke | 2009 | Brystevand publishers |
| Eruru | G. I. Nwaozuzu | 2009 | Format Enugu |
| Amaghị Igbo asụ oyibo | J. C. Okeke | 2009 | Edumail publications ltd |
| Akpịrị richie ụzọ.. | J. I. Obidiebube | 2009 | Auschaki inter'l publishers |
| Ihe chi fotere | J. C Okeke | 2009 | Edumail publishers |
| Mmanwụ kote okwu | Casmir U. Abara | 2009 | Pacific publisher Ltd |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Ọzụzụ bụ nwa | Gloria imo | 2009 | Mis-fav publishers |
| Ọkpọtukwala | Philip I. N Okoye | 2009 | Teo publishers Enugu |
| Aka ekpuchi eziokwu | S. N. Okafo | 2010 | Elites publishers |
| Agwọ bara n'ọnụ | R. M Ozoagu | 2010 | Fidgina |
| Oyoyo chi m | S. Ọ Agwunwa | 2010 | Midfield |
| Ije ego | Maazi R. M Nwokelue | 2010 | Noble resources Ltd |
| Nwadiugwu | Hon. Ezejesi N. R | 2010 | Pacific publishers. |
| Mmiri zochaa anyanwụ awa | J. J. C. Dike | 2011 | Pacific publishers. |
| A karụsia ngene | I. Ogochukwu | 2011 | Format Enugu |
| Azi hụ akụ | Augestune Ifedi Onyekwere | 2011 | Lincel, Onitsha |
| Omekịịtọrọ | Hon. Ezejesi N R | 2011 | Pacific publishers |
| Ebe nwa ewu na-akpa nri | Okechukwu otukwu | 2011 | Noble resources ltd |
| Ihe onye kwere | Hon. Ezejesi. R. | 2011 | Pacific publishers. |
| Nwadiugwu | Hon. Ezejesi. R. | 2012 | Pacific publishers. |
| Onye ụlọ egbughi onye (ọ pụọ isi awọ) | Joyce ifeoma obidiebube | 2012 | Lincel publishers |
| Nwaanyị ji uru | Okechukwu Chizitere | 2012 | Mis-fav publisher Nig |
| Onye gbakaa ute | Grace okuchi obasi | 2012 | Pacific publishers |
| Onye gbaa bọọlụ | Aloke inyere jnr | 2012 | Robetech publishers |
| Nkata ekpudo ọkụkọ | Chizitere Okechukwu | 2012 | Mis-fav publisher |
| Ụwa adịghị ka echere | Joseph C. Dike | 2012 | Pacific publisher |
| Ukpana ntị.. | Joseph C. Dike | 2013 | Pacific publishers |
| Ifeatụ | Obidiebube, J. I. | 2013 | Pacific publishers |
| Nkụ onye kpatara.. | C. O ihejiekwu | 2013 | Trumpetes concept |
| Onye ọsọ ahịa | Okeke Chika jerry | 2013 | Edumail publishers |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Obiọma na ndị mụrụ ya | Okeke Chika jerry | 2013 | Edumail publisher |
| Ụwa na-eme ntụgharị | Obunne Victor | 2013 | Pacific publishers |
| Zere ụwa | Okechukwu C. Ihehirika | 2013 | Format publishers (Nig) Ltd |
| Ahịa ọma na-ere onwe ya | SR. Mary James Ntiajuokwu | 2013 | Pacific publishers. |
| Nkechinyere | SR. Mary James Ntiajuokwu | 2014 | Pacific publishers. |
| Ihe onye tụrụ n'ahịa | Okoro mark Ogbonnaya | 2015 | Pacific publishers. |
| Mgbọrọgwụ njọ | Nwoye Ngozi | 2015 | Pacific publishers. |
| Ihe onye kwere | Hon. Ezejesi N. R | 2015 | Pacific publishers. |
| Nkịta tara ọkpụkpụ anyawara ya n'olu | Nwogu N. Ijeoma | 2015 | Pacific publishers. |
| Ụwa dị omimi | Mark Okoro Ogbonnaya | 2015 | Pacific publishers. |
| Nganga buru ụzọ | Nwaogu N. Ijeoma | 2015 | Pacific publishers. |
| Ibuchim? | Mark Okoro Ogbonnaya | 2015 | Pacific publishers. |
| | | | |
| Nke onye metara | A. L. Okoli | 2015 | Bold step ventures |
| Nze nwata chiri | Mark Okoro Ogbonnaya | 2015 | Pacific publishers. |
| Toochi nwa nkecha | Okeke Chika jerry | 2015 | Edumail publishers Ltd |
| O me ihe jide ọfọ | Ezumezu Emmanuel | 2015 | Ask me publishers Ltd |
| Ezesinachi | Okoro mark Ogbonnaya | 2015 | Pacific publisher Ltd |
| A tuo nkịrịka nkata | Okoro Mark Ogbonnaya | 2015 | Pacific publishers. |
| Nwaanyị bụ ihe ukwu | Joyce ifeoma obidiebube | 2015 | Pacific publishers. |
| Nwayọ bụ ije | Ndibe princess Ngozi | 2016 | Klaax limited Onitsha |
| Ọchụ ihe ukwu (Ga ebute agba enyi) | Okoro mark Ogbonnaya | 2016 | Pacific publishers. |
| Jonjoloko (ka ije ụwa na-atụ) | Okoro mark Ogbonnaya | 2017 | Pacific publishers. |

| | | | |
|---|---|---|---|
| Ụwa adịghị ka echere | Okoro mark Ogbonnaya | 2017 | Pacific publishers. |
| Otu nne na-amụ | Mark Okoro Ogbonnaya | 2018 | Crates pace independent publishing |
| Ụwa na-eme ntụgharị | Mark okoro Ogbonnaya | 2018 | Crates pace independent publishing |
| Chiazọka | Cecelia ifeoma Okeke | 2018 | Format publishers Onitsha |
| Ihe ana-achọ n'uko elu.. | Maazi Robert M. Nwokelue | 2019 | Ask me publishers |
| Ọgadịmma | Chinenye Okolo | 2020 | Lincel publishers Ltd |
| Ọnụ ndị ụwa | Obidike calista | 2020 | Klaax limited onitsha |
| Nwa eyighi nna | Emmanuel Chinedu | 2020 | Ask me publishers |
| Ụwa bụ nke onye? | Nwogu N. Ijeoma | 2020 | Metag publisher |
| Akụ nke ụwa | Philip I. N Okoye | 2020 | Teo publishers |
| Gawa mbọ | S. N Okafor | 2020 | Elite's publishers |
| Ikenna nwata ntị ike | Ezumezu Emmanuel | 2020 | Ask me publishers |